**COURSE GUIDE**

# IGB 212
# FOLKTALES (IFO)


Ndị Odee Ihe Ọmụmụ: Prọfesọ Iwu Ikwubuzo
Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Asụsụ Mba Afrịka na Asia, Mahadum Legọọsị, Naịjirịa (Dept. of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos, Nigeria).
Dkt. Adaora Lois Anyachebelu
Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Asụsụ Mba Afrịka na Asia, Mahadum Legọọsị, Naịjirịa(Dept. of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos, Nigeria).

Onye Odezi Ihe Ọmụmụ:
Prọfesọ H. S. Igboanụsị
Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan,
Naịjirịa (Dept. of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Nigeria).

Onye Nchịkwa Ihe Ọmụmụ:
Prọfesọ H. S. Igboanụsị
Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Naịjirịa (Dept. of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Nigeria).



**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

© 2021 by NOUN Press
National Open University of Nigeria
Headquarters
University Village
Plot 91, Cadastral Zone
Nnamdi Azikiwe Expressway
Jabi, Abuja

Lagos Office
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island, Lagos

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

All rights reserved. No part of this book may be reproduced, in any form or by any means, without permission in writing from the publisher.

Printed 2021

ISBN:

**NDỊNA IHU** **AKWỤKWỌ**


Mkpọlite ……………………………………………. iv
MbunucheIzugbe…………………………..……….. iv
MbunucheKpọmkwem………………….………….. iv
Nkọwa IheỌmụmụ ………………………………….. iv
Ngwa IheỌmụmụ……………………………………. v
YunitIheỌmụmụ………………………..…………. v
Akwụkwọ Ọgụgụ na Nrụtụaka……………………… v
Nnwale ……………………………………………… vi
Ihe Omume ………………………………………….. vi
Ule na enyemmaakị….…………………………….. vii
Usoro Enyemmaakị……………….……………….. vii
Ndịna Ihe Ọmụmụ…………………….…………. vii
Ka a ga-esi ritekarịcha uru iheọmụmụ a …………… viii
Ndị Nduzi na Nkuzi………………………………… ix
Nchịkọta ……………………………..…………….. ix

## MKPỌLITE

IGB 212 bụihe ọmụmụ simesta abụọ, nke nwere ihe ọmụmụyunit abụọmaka ndị nọ n'ihe ọmụmụ afọ nke abụọ.
E mebere ya maka ụmụakwụkwọ ndịihe ọmụmụ ha bụ Igbo kpọmkwem. Ihe ọmụmụkọọsụ a nwere yunit iri na anọ nke chịkọtara/kpokotara mkpọlite ihe niile gbasara IGB 212.

## MKPỌLITE IHE ỌMỤMỤ IGB 212

Akụkọ ifo bụ otu n'ime nkenụdị/ngalaba agụmagụọnụ (ọdinala) Igbo. E ji ya eme mmadụ obiụtọ; e jikwa ya azulite ụmụaka n'ibi ezi ndụ. A kwadorongwaihe ọmụmụ a site n'ifo ndi Igbo ndi a tụrụ anya na ha ga-abara ụmụakwụkwọ Igbo uru.

Nduzi ihe ọmụmụ a ga-akọwa ihe kọọsụ a na-ekwu maka ya, akwụkwọ dị icheiche a ga-agu, na ka a ga-esi jiri ha rụọ ọrụ. O ga-ekwu oge yunitihe ọmụmụ ọbụla nwere ike iwe na ka a ga-esi mee ihe ọmụmụ so ya. Ọ dị mkpa na aga na-aga klaasị ka nwata akwụkwọ na ndị nkuzi ya nwee ike kparịta gbasara ihe nhịamahụ nwere ike ịdapụta n'iheọmụmụ a. Ihe ọmụmụkọọsu a nwere yunit iri na anọ nke chịkọtara/kpokọtara mkpolite ihe niile gbasara IGB 212.

## MBUNUCHE IZUGBE

E mebere kọọsụ a iji kọwaa ihe dị iche iche banyere akụkọ ifo Igbo na i ji mee ka nwatakwụkwọ mụọ n'ụzọ dị omimi gbasara akụkọifo, ọkachasị akụkọifo ndi Igbo. Ihe ndịgbara ọkpụrụkpụ a na-atụ anya ha bụ:

Ilebanye anya n'ifo dịka akụkọ ozuru ụwa ọnụ;

a. Ụdị akụkoifo e nwegasịrị, ya bụ nkenuụdị ifo;
b. Itule isiokwu ndị na-agbasị elu n'akụkọ ifo;
c. Ilebami anya n'ihe na-eme n'ụwa ifo,ǹtọ̀alaemereme, agwa na nzipụtaagwa n'ifo, na nkà akọmakọ n'ifo;
d. Usoroakọmakọ ifo, ọkọakụkọ (ọkọọ) na ndịọgentị(ndịogee), dịka ha si metụta ifo;
e. Abụ n'ifo, Nzipụta ekereuche onwe n'oge emume ifo/akụkọ ifo nkọmịrịkọ

## MBUNUCHE KPỌMKWEM

Yunitihe ọmụmụọbụla e nwere na kọọsụ a nwere mbunuche nke ya. Ọ kwesịrị ka a gụọ ya tupu a malite ileba anya na nkuzi e nwere na yunit ọmụmụ ọbụla. A tụrụ anya na a ga-eme nke a tupu e mechaa kọọsụ a, bido n'isi ruo na ngwụcha, nwata akwụkwọ ga-enwe ike.

a. kọwapụta n’uju ihe akụkọ ifo pụtara na njirimara ya;
b. gosipụta udịakụkọ ifo e nwegasiri n’Igbo;
ch. nyochaa n’ụzọ doro anyaụwa akụkọ ifo, agwa ndi a na-ahụ n’ifo, alaemereme na nkàakọmakọ dị n’ifo Igbo;
d. kọwaa ụdị mmekọrịta dị n’etiti ọkọakụkọ na ndịogenti n’akụkọ ifo Igbo
e. ima ụfọdụ abụ ndị na-agbaelu n’ifo Igbo, tinyekwara inyocha maọbụ itule nkamma na ụdị ekereuche na-apụta ihe n’ifo;
f. tulerịkọta ihe jikọtaraakụkọ ifo na nkọmịrịkọ.

## NKỌWA IHE ỌMỤMỤ

Iji mee kọọsụ a nke ọma ma meruo ya n’isi, ọ dị mkpa na nwata akwụkwọ gụrụ yunit ọbula, gụọ akwụkwọ ọgụgụ atụpụtara, nakwa akwụkwọ ndị ọzọ NOUN wepụtara. Yunitọbụla nwere ihe omume nke onwe so ya. N’agbata dị iche iche na kọọsụ a,a tụrụ anya na a ga-ezite ihe omume ndị ahụ e mere maka ntule. Ọ ga-ewe ihe dị ka izu ụka iri na ise imecha kọọsụ a. na ngwụcha kọọsụ a, e nwere ule mmechi. E depụtara ihe niile gbasara kọọsụ a n’ebe a. A ga-ewepụta oge gụọ yunit ọbụla ọfụma ka e nwee ike mee kọọsụ a ọfụma ma mechaa ya n’oge.

## NGWA IHE ỌMỤMỤ

Ihe ndị ya na kọọsụ a so gụnyere

1. Yunit iheọmụmụ
2. Akwụkwọ ọgụgụ
3. Failu Ihe Omume
4. Oge nzipụta ihe amụtarala

## YUNIT IHEỌMỤMỤ

**Modul 1 Mkpolite**

Yuniit 1 Ihe bụ Akụkọ ifo
Yuniit 2 Njirimara Akụkọ ifo
Yuniit 3 Nkenụdị Ifo Igbo
Yunit 4 Ụwa Akụkọ Ifo.
Yunit 5 EbeEmereme Ifo Igbo.

**Modul 2 Ndịna Akụkọ Ifo**

Yunit 1 Isiokwu Ifo
Yunit 2 MbamụrụIfo
Yunit 3 Ihe ndị na-echere akụkọ ifo aka mgba n’oge ugbu a

**Modul 3 Emume/Akọmakọ Ifo Kpọmkwem**

Yunit 1 Usoro Mmalite na Mmechi Ifo
Yunit 2 Ọkọakụkọ Ifo
Yunit 3 Ndịọgentị n’Ifo
Yunit 4 Nzipụta Ekereuche onwe naIfo dịka nchepụta ọkọakụkọ

**Modul 4 Ọdịdị Ifo**

Yunit 1 Nhaziakụkọ n’Ifo (ịmaatụ, abụàgụèkwe dị n’akụkọ ifo Igbo)
Yunit 2 Nka Akọmakọ Ifo
Yunit 3 Agwa na Nzipụtaagwa n’Ifo Igbo
Yunit 4 Asụsụ/Nkamma dị n’akụkọ ifo

**IGB 212**
**Modul 1** bụ ndubanye maọbụ mkpọlite n’ihe bụ akụkọ ifo n’ozuzuoke,akụkọ ifo dịka ihe zuruụwa ọnụ, ụdị akụkọ ifo ndị e nwegasịrị, uru dị n’akụkọ ifo na ọtụtụ ihe ndị na-echere akụkọ ifo aka mgba n’oge ugbu a. Modul 2 lebanyere anya n’ụfọdụ ihe ndị na-agba elu n’akụkọ ifo /njirimara akụkọ ifo.Modul 3 gbakwasịrị ụkwụ n’ụfọdụ emereme dị n’akụkọ ifo, ebe Modul 4 lebanyere anya na nkàmma dị n’akụkọ ifo.

E nwere ihe ọmụmụyunit iri na isii n’ihe ọmụmụa. Ihe mejupụtara yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla bụihe ọmụmụ otu izuụka nke gụnyere ihe kachasị mkpa a tụrụ anya na-a ga-amụta, usoro kọosụ a, ngwa kọọsụ a ndị a ga-eji amụ ihe, n‘ihe nnwale nke onwe. Tinyekwara ihe omume onye nkuzi ga-amaakị ọ bụ ihe ndị a niile ga–enyere gị aka iji nweta mbunuuche e ji wee mebe yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla na nke kọọsụihe ọmụmụ nkuzi a n’ozuzu oke.

## AKWỤKWỌ ỌGỤGỤ NA NRỤTỤAKA

Ngwa ihe ọmụmụ bu ihe kachasị mkpa e nwere maka kọọsụ a. N’agbanyeghi nke a, i nwekwara ike ịgụ akwụkwọ ọgụgụ ndị ọzọ, ndị e wepụtara dịka ihe nrụtụaka.

## NNWALE

E nwere usoro nnwale n’ihe ọmụmụ a; ihe omume onye nkuzi lenyere anya na ule nke a ga-ede ede. N’ime ihe omume ndị a, a tụrụanya na ị ga-etinye ihe ndị i mụtara oge ị na-eme ihe ọmụmụ n’ọrụ.

Ị ga-enyerịrịonyenduziihe ọmụmụihe omume gịka o wee nwee ike inwale gị dịka oge e nyere na usoro akwụkwọ faịlụ sị dị.

Ọrụ nke ị ga-enye onyenkuzi maka nnwale ga-ebu maakị iri atọ n’ime maakị niile kọọsụ ahụ nwere.

## IHE OMUME

E nwere ihe omume onyenkuzi lenyere anya na ngwụsị yuniit nke ọbụla. A tụrụ anya na ị ga eme ihe omume niile ndị ahụ.A ga-eme gị nnwale na ha niile, mana atọ ndị kacha mma bu nke a ga-e were maka nnwale ugboro ugboro.Nnwale ọbụla bu maaki pesenti (10%).Oge i mechara nnwale nke ọbụla, were ya na fọọmụ nnwale nke onyenkuzi ga-eleba anya wegara onyenduzi ihe ọmụmụ.Gbaa mbo hụ na nnwale obula rutere onyenduzi ihe ọmụmụgị aka tupu ụbọchị e nyere maọbụ ubochi e nyere kpọmkwem. Ọ bụrụ na o nwere ihe ọbụla ga-eme na ị gaghị emecha ọrụ gị; gbaa mbọ hụ na onyenduzi ihe ọmụmụmaara maka ya tupu ụbọchi e nyere maka iwebata ọrụ ndị ahụ eruo, ka gị na ya kparịta ma onwere ike inyetụkwu gi oge. A gaghị agbatị maọbụ nyekwa oge ọzọ, ma e wepụ n'ọnọdụ enweghịzị ihe a ga-eme maka ya.

## ULE NA ENYEMMAAKỊ

Ule ikpeazụ maka IGB 212 ga-ewe áwà abụọ ma buru pesenti iri asaa(70%) n'ime maakịihe ọmụmụniile. Ule ikpeazụ ga-adịkwa ka ajụjụ e zutere n'ihe omume dị iche iche e merela. A ga-anwale nwata akwụkwọ n'ihe niile a kuziri ya n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-agba mbọ hụ na o ji oge e nwere n'agbata mmechi nkuzi ikpeazụ na ule gụgharịa ihe niile e mere n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-abakwara ya uru ma ọ gụgharịa ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkuzi nyere tupu ule eruo.

## USORO ENYEMMAKỊ

Tebul a na-esote na-egosi etu a ga-esi nye maakị n'ihe ọmụmụ a.

| Ihe Omume | Maakị |
|---|---|
| **Ihe omume 1-4: maakị n'ime atọ kachasị mma – (10% x 3)** | **30%.** |
| **Ule ikpeazụ** | **70%** |
| **Mgbakọ** | **100%** |

**Ndịna Ihe Ọmụmụ A**

| Yunit | Isiokwu | Emereme kwa izu | Ihe omume |
|---|---|---|---|
| | Nduzi Ihe Ọmụmụ | 1 | |

**Modul 1 Mkpọlite**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Ihe bụ Akụkoifo | 2 | |
| 2 | Njirimara Akụkọ ifo | 3 | |
| 3 | Nkenụdị Ifo Igbo | 4 | |
| 4 | Ụwa Akụkọ ifo | 5 | |
| 5 | EbeEmereme IfoIgbo | 6 | **Ihe omume 1** |

**Modul 2Ndịna Akụkọ Ifo**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Isiokwu Ifo | 7 | |
| 2 | MbamụrụIfo | 8 | |
| 3 | Ihe ndị na-echere Akụkọ ifo aka mgba n’oge ugbu a | 9 | **Ihe omume 2** |

**Modul 3Emume/Akọmakọ Ifo Kpọmkwem**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Usoro Mmalite na Mmechi Ifo | 10 | |
| 2 | Ọkọakụkọ Ifo | 11 | |
| 3 | Ndịogentị n’Ifo | | |
| 4 | Nzipụta Ekereuche onwe na Ifo dịka nchepụta ọkọakụkọ | 12 | **Ihe omume 3** |

**Modul 4Ọdịdị Ifo**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Nhaziakụkọ n’Ifo (ịmaatụ, abụ àgụèkwe dị n’akụkọ ifo Igbo) | 13 | |
| 2 | Nka Akomakọ Ifo | 14 | |
| 3 | Agwa na Nzipụta agwa n’Ifo Igbo | 15 | |
| 4 | Asụsụ/Nkamma dị n’Akụkọ ifo | 16 | **Ihe omume 4** |
| | Nkuzigharị | 17 | |
| | Ule | 18 | |
| | **Mgbakọ** | 19 | |

## KAA GA-ESI RITEKARỊCHA URUIHE ỌMỤMỤ A

N’ụdị ihe ọmụmụa, yunit na-anọchianya onyenkuzi Mahadum. Uru nke a bara bụ na ọ na-eme ka e nwee ike gụọ ma mee Ihe omume dị na ngwa nkuzi etu o si masị onye, n’ebe na n’oge o ji chọọ.Ya ka o ji dị mkpa na nwata akwụkwọ hụtara nke a dịka nkuzi ihe kama igere onyenkuzi. Dika onyenkuzi nwereike inye giihe omume na klaasi, yunit ihe ọmụmụ bu iheomume i ga-eme n’oge o kwesiri.

Yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla gbasoro otu ụdị usoro. Nke mbụ bụ ndubanye n’isiokwu maọbụ mkpọlite isiokwu nke yunit ahụ na etu otu yunit nke ọbụla si wee metụta yunit ndị ọzọ na kọọsụ ahụ na ozuzuoke. Nke na-esote ya bụrụmbunuche izugbeihe ọmụmụ e nwegasiri. Mbunuche izugbeihe ọmụmụ bụ ihe ga-enyere gị aka iji mata ihe i kwesiri imesi tupu ịbịa na njedebeihe ọmụmụ gị. I ga-ewere mbunuche izugbeihe ọmụmụndị a dịka ihe ga-eduziihe ọmụmụ a. Oge e mechara ihe dị na yunit a, a ga-alaghachi azụ, tulee ma enwetakwara ihe ndị ahụ mbunuche na a ga-enweta tupu ihe ọmụmụ yunit a agwuchaa. Ọ bụrụ na

ị na-eme nke a kwa mgbe kwa mgbe ị ga-ewelite n'ụzọ dị elu ohere i nwere igafe n'ule,ya bu, ime nke ọma nakọọsụ a.

E tinyekọtara nnwale nke onwe n'ime yunit nke ọbụla; e nyekwara azịza ha na njedebe kọọsụ a. Ime nnwale ndia ga-e nyere gi aka inweta mbunuche yunitihe ọmụmụ ma kwadokwa gị maka ihe omume na ule. I ga-eme nnwale nke onwe ọbụla, ebe ọbụla ịhụrụ ya na yunit ihe ọmụmụ a. A ga-enwegasi ọmụmaatụ yunit ihe ọmụmụ a. Mee nke ọbụla oge i rutere na ya.

## NDỊNDUZI NA NKUZI

E wepụtara awa asatọ maka nkwado ihe ọmụmụ kọọsụ a.
A ga-eme ka ị mata ụbọchị, oge na ebe a ga-anọ eme ihe ọmụmụ ndị a, tinyekwara aha, akara ekwentị onyenkuzi gi ozigbo e nyere gị otu ị ga-esonye maka ihe ọmụmụ a.

Onyenkuzi unu ga-etinye maakị ole i nwetara na ihe omume gi,tinyekwa anya n'ọganihu maọbụ nsogbu ọbụla ị nwere ma nyere gi aka oge a na-eme kọọsụ a.I ga-ezigara onyenkuzi ihe ọmụmụihe omumegịonyenkuzi ga-amaakị n'ezi oge tupu ụbọchị e wepụtara maka ime nke ahụ. Onyenkuzi gị-enye maakị i nwere ma zighachịrị gị ya n'oge na-adịghị anya.

Atụfula oge ịkpọtụrụ onyenkuzi gi ma ọbụrụ na:

- ị ghọtaghị akụkụ ọbụla na yunit ihe ọmụmụ maọbụ…
- i nwee mgbagwojuanya na ọrụ nnwale nke onwe.
- o nwere ajụjụ maọbụ nsogbu i nwere n'ihe omume, ihe onyenkuzi dere n'ihe omume gịmaọbụn'usoro o siri nye gị maakị.

I ga-agbalisi ike ịsonyen'ihe ọmụmụ a na-eme na klaasị. Nke a bụ naanị ohere i nwere ịhụ onyenkuzi gị ihu na ihu ma jụkwa ya ajụjụ nke a ga-enweta osisa ya ozigbo ahụ. I nwere ikeijụ ajụjụ metụtara nsugbo ọbụla cheere gi aka mgba dịka ị na-emeihe ọmụmụ gị. Detucha ajụjụ ọbụla i nwere tupu i gaba ihe ọmụmụ, iji wee ritacha uru ikwesịrị irita na ya. I ga-erita ọtụtụ uru site n'isonyesiike.

## NCHỊKỌTA

A na m a si ya gaziere gi n'ihe ọmụmụ ama na-atụ anya na ị ga anwe mmasị ma hụtakwa ihe ọmụmụa dika ihe bara uru.

**MAIN COURSE**

**NDỊNA** **IHUAKWỤKWỌ**


| | | |
|---|---|---|
| **Modul 1** | **Mkpọlite IGB 212…………………..** | **1** |
| Yunit 1 | Ihe bụ Akụkọ ifo……………………. | 1 |
| Yunit 2 | Njirimara Akụkọ ifo ………………… | 8 |
| Yunit 3 | Nkenụdị Ifo Igbo…………………….. | 13 |
| Yunit 4 | Ụwa Akụkọ ifo………………………. | 34 |
| Yunit 5 | EbeEmereme ifo Igbo………………… | 40 |
| **Modul 2** | **Ndịna n'Akụkọ ifo……………………** | **48** |
| Yunit 1 | Isiokwu Ifo…………………………… | 48 |
| Yunit 2 | Mbamuru Ifo…………………………. | 72 |
| Yunit 3 | Ihe ndị na-echere Akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a……………………. | 83 |
| **Modul 3** | **Emume Akọmakọ Ifo Kpọmkwem…………….………….** | **91** |
| Yunit 1 | UsoroMmalite na Mmechi Ifo………… | 91 |
| Yunit 2 | Ọkọakụkọ Ifo…………………………. | 98 |
| Yunit 3 | Ndiọgentị n'Ifo……………………….. | 104 |
| **Modul 4** | **Ọdịdị Ifo………………………………** | **107** |
| Yunit 1 | Ndokọ/Nhaziakụkọ n'Ifo (ịma atụ, abụàgụèkwe dị n'akụkọ ifo Igbo)……… | 107 |
| Yunit 2 | Nka Akọmakọ ifo……………………… | 113 |
| Yunit 3 | Nnyocha Agwa na Nzipụtaagwa n'Ifo Igbo ……………………………… | 116 |
| Yunit 4 | Asụsụ/Nkamma di n'Akụkọ ifo……….. | 122 |

# MODUL 1 MKPỌLITE

Yunit 1 Ihe bụ Akụkọ ifo
Yunit 2 Njirimara Akụkọ ifo
Yunit 3 Nkenụdị Ifo Igbo
Yunit 4 Ụwa akụkọ ifo.
Yunit 5 Ebe emereme ifo Igbo

## YUNIT 1 IHE BỤ AKỤKỌ IFO

### NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
  3.1 Gịnị bụ Agụmagụ?
  3.2 Agụmagụ Ọdịnala?
  3.3 Ihe bụ Akụkọ ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Iheomume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Tupu edemede abịa, mba ọbụla n'Afrịka nwere usoro ha si akuzi, ma na-azulite ụmụaka n'ibi ezindụ, tinyekwara isite n'ime ya wee nọrịa oge. Igbo, dịka otu agbụrụ e nwere n'Afrịka nwekwara usoro dị otu a. Ọ bụ site n'ụzọ dị otu a ka ha si wee na-ahafe amamihe ha, ahụmihe ụwa ha, nkwenye n'omenala ha. Usoro nkuzi di otu a, ka a na-akpo agụmagụ ọdịnala/agụmagụ ọnụ; n'ihi na ọ bụn'ọnụ ka esi akọpụta, emepụta maọbụ ekwuputa ha. Ihe nke a pụtara bụ na ndịIgbo nweburu agụmagụ tupu agụmagụ na ededmede amalite. Otu n'ime agụmagụ ọdịnala ndị Igbo akụkọ ifo nke a ga-elebanye anya n'ihe ọmụmụ a.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụ a, i ga-enweike:

- kọwapụta agụmagụ dịka osi metụta ihe ọmụmụ an'uju
- kwuo ụdị agụmagụ e nwere
- nye nkọwa doro anya maka agụmagụ ọnụ (ọdịnala)
- kọwaa akụkọ ifo dịka otu n'ime agụmagụ ọnụ (ekwurunọnụ) ndị Igbo.

# 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

## 3.1 Gịnị bụ Agụmagụ?

E kwuo agụmagụ, ụfọdụ mmadụ na-eche na ọ bụ ihe ọbụla edeturu n’akwụkwọ, nke e nwere ike ịgụ agụ; mana ọ bụghịihe nke a ka agụmagụ pụtara n’ebe a. Agụmagụ pụtara “literechọ” n’olu Bekee.

Agụmagụ bụ edemede, ekwumekwu, mmemme ngosi maọbụ akọmakọ nke na-enye mmadụ obiụtọ, amamihe, ma na-akpalitekwa mmụọ mmadu.̣ Agụamagụ bụ enyo eji ahụ ụwa na ihe dị n’ime ya. Agbụrụ ọbụla nwere agụmagụ nke ha. Ọmụmaatụ, ndị Igbo, Awụsa, Yoruba, Edo, ndị Ọcha, dgz. nwechara agụmagụ nke ha.

Agụmagụ dịka ederede maọbụ ekwurekwu e jiri asụsụ chọọ mma nke na-enye onye gụrụ ya maọbụ onye nụrụ ya obiaṅụrị pụrụ iche. Nke a pụtara n’agụmagụ nwere ike ịbịa n’ụdị ederede maọbụ ekwurekwu.

E kewara agụmagụ ụzọ abụọ, ha bụ:

i. Agụmagụ ọnụ/ọdịnala
ii. Agụmagụ ederede/ugbu a

AGỤMAGỤ

Agụmagụ ọnụ/ọdịnala Agụmagụ ederede/ugbua

Akọmakọ ọnụ/ ọdịnala Abụ ọnụ/ ọdịnala ejije/egwuregwu ọnụ/ọdịnala ejije ugbua iduuazụ abụ egwuregwu/ ugbua

Akụkọ ifo so n’otu n’ime nkenuụdị/ngalaba agụmagụ ọnụ (ọdịnala) ndị Igbo nwere.

**NNWALE ONWE 1**

1. Gịnị bụ agụmagụ?
2. Kedụ ụdị agụmagụ e nwere?

## 3.2 Agụmagụ Ọdịnala

Agụmagụ ọnụ/ọdịnalabụ agụmagụsi n’aka fere n’aka. Agụmagụ ọnụ /ọdịnala bụ agụmagụ ndị mmadụ chepụtaran’isi ha ma na-ekwupụta n’ọnụ nkịtị tupu edemede apụta. Ọbụagụmagụ e ji ọnụ ekwu, akọ, eme

maọbụ agụ. Ọ bụ agụmagụ dị ọkpụ nke si n'aka nnanna anyị ha rute anyị aka. Ọna-esi n'otu ọgbọ agafere n'ọgbọ ọzọ. Agumagu Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha.

Mgbe e chepụtara agụmagụ ọdịnala, e detughi ha ede n'akwụkwọ. N'ihi na e deghị ihe ndị a ede, a na-enwe mgbanwe, n'ụdị ntinye maọbụ mwepụ n'ihe a na-agụ maọbụ akọ. Ma ugbua, e detuola ọtụtụ n'ime ha n'akwụkwo; ma nke a agaghị eme ha ka ha gharazia ịbụ agụmagụ ọdịnala. E nweghi ike ikwu onye maọbụ ndi chepụtara agụmagụ ọnụ. E nweghịkwanụ ike ikwu oge ọ malitere, ihe a mara bụ na ọ malitere oge ndị Igbo malitere ebimndụ ha. O nweghị otu onye ga-asị na ọ bụ ya nwe agụmagụ ọdịnala. Ọ bụ ihe ọhaobodo nwekọtara ọnụ.

Dịka Nwadike (2003: 1) siri kọwaputa, agụmagu ọdinala bụ otu ụzọ n'omenala ndī. Ọ gakwara n'ihu kowaa na tupu e bipụta igwe na-ebi akwụkwọ, ọhaobodo dị iche iche gbalịrị ichekwaba njirimara ha site n'iji okwuọnụ hanye omenala ha n'aka ụmụ na ụmụ ụmụ ha. Ugbu a enweela ọtụtụ ụlọmbipụta akwụkwọ dị iche iche; mana agụmagụ ọdịnala ka na-agakwa n'ihu na mba Afrịka. N'ihi nammadụ tufue ihe o ji ama mma, mma ya a rụọ.

A na-esite n'agụmagụ ọdịnala egosipụta ndụ na usoro ebimndụ ndị. Ọ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche mmadụ. Agụmagụ ọdịnala na-ebu ndị a na-emepụtara ya n'obi. Ọ na-enwe ebe n'oge e ji e mepụta ya.

**Nkenụdị Agụmagụ Ọnụ/Ọdịnala**

E kere agụmagụ ọdịnala ụzọatọ. Ha bụ:

i. Akụkọọnụ/ọdịnala
ii. Egwuregwu/Ejije ọnụ/ọdịnala
iii. Abụ ọnụ /ọdịnala

E nwekwara ụdị agụmagụ ọnụndị ọzọ dịka: agwụgwa (riddles), okwuntụhị/okwu mgbawaire (ojuọnụ) (tongue twister), soromchịa, nkaokwu, ilu. Agụmagụ ọnụ ndị a dị oke mkpa n'ihi nkadị n'ime ha a na n'ihi oke ọrụ ha na-arụ.

Nwadike (2003:7), n'akụkụ nke ya, mere eseresenke na-egosi na ha di ihe anọ mejupụtara agụmagụ ọdịnala. Ha bụ ndị a:

i. Akụkọ
ii. Ejije
iii. Abụ
iv. Atụmatụ Agụmagụ

**NNWALE ONWE 2**

1. Kedụ ndị nwe agụmagụ ọnụ/ọdịnala?
2. Kedụ ka e si emepụta agụmagụ ọnụ/ọdịnala?
3. Gịnị bụ agụmagụ ọnụ/ọdịnala?

## 3.3 Ihebụ Akụkọ Ifo

**Akụkọ ọdịnala/ọnụ**

Akụkọ bụ otu n'ime agụmagụ ọnụ e nwere n'Igbo. Nwadike (2003) n'akụkụ nke ya kewara akụkọ n'ụdị a:




Ọ gakwara n'ihu kewaa akụ̀kọala dịka chaatị a si gosi




N'ọmụmụihe a, anyị ga-elebanye anya n'akụkọ ifo

**Akụkọ Ifo**

Akụkọifo bụ akụkọ emeghị eme nke na-agbadokarịsị ụkwụ n'ala mmadụ, n'ala mmụọna n'ala ụmụanụmanụ. Acholonu (n.d: 71) kọwapụtara n'akụkọ ifo bụ agụmagụ zuru oke, nke enweghị ngwarangwara, n'ihi n'akụkọ ifo na-ayọchapụta ahụmihe ndi Igbo, omenala ha na nkwenye nke a na-akụghị ihe tupu ndị ọcha were bịa. Ọ bụ akụkọ ọdịnala nke sitere na mgbe gboo. O nweghi onye maara mgbe o bidoro maọbụ ndị bidoro ya. Onye ọbụla totere tokwuru akụkọ ifo. Ya mere, anyị ji asị na akụkọ ifo dị ọkpụtụrọkpụ.

Nke a mere e ji asị na akụkọ ifo bụ akụkọ arọmarọ, n'ihi na ọbụakụkọ metụtara ụmụmmụọ, mbe na ụmụanụmanụ; ụmụmmụọ na ụmụmmadụ; ụmụmmụọ na ụmụanụmanụ, dgz.

Ifo bu ozuru mba ọnụ n'ihi na mba ụwa ọbụla nwere usoro akụkọ ifo nke ha. Ọdị nnukwu mkpa na ndu mmadụ ọkachasị na ndụ ndị Igbo n'ihi na e ji ya akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ ihe e ji eme ndị̀ mmadụ obi ụtọ/aṅụrị. E ji ya akụziri ụmụaka ihe tụmadị eziomume, omenala na nkwenye ndị Igbo dị iche iche. Nke a ga-enye aka ime ka ụmụaka site na nwata mara ihe ndịdịmma na nke dị njọ, nakwa etu ndị mụrụ ha si na-elegara ụwa anya. Ọ ga-enyekwara ha aka ịmụta ezi agwa nakwa ịgbaso eziomume ka ha wee bie ezi ndụ tosịrị ndị ga-abụ ndị nne na nna, ndịisi ezinaụlọ nakwa ndịndu obodo. Ọbụnke a kpatara omenala na nkwenye ndị Igbo ji dị ọtụtụ n'ifo Igbo.

E jikwa ifo akụziri ụmụaka ihe dị ichiiche dịka irubeisi, ịsọpụrụnsọala, ibelata oke ọchịchọ, ngana, ekworo, nnupụisi nakwa ihe ndịọzọ. A na-ejikarị akụkọ mbe dịka anụmanụ aghụghọ zuru ahụwere egosipụta ihe ndi a nakwa ọghọm dị n'ime ha.

Akụkọ ifo bụkwa akụkọ e ji egosipụta akpamike odogwu, amamihe, eziagwa, ahụmihe gbasara ụwa, ịkpa ọchị na ito mmadụ, inye Chukwu ùgwù na nsọpụrụ na igosipụta ihe kpatara ihe ụfọdụji dị etu ha dị, dịka etu ọnwụ siri bịa n'ụwa, ihe mere ntịmmadụji dị belebele, ihe kpatara nkịta jiri bụrụ anụ ụlọ, dgz. Site n'ihe e depụtara gbasara akụkọ ifo, anyị ga-asị na ifo bụ nnukwu ngwaọrụ e ji azụ ụmụaka.

Akụkọ ifo bụ ụdị akụkọ zuru mpaghara niile ọnụ n'ala Igbo. Obodo dị icheiche nwere aha ha nyere ifo, dika e gosiri n'omumaatu ndi na-esonu:
Ngọọkpaala dị n'Imo Steeti – ife, ufe, ufere

Ụmụeze Anam, Nsugbe, Ọgwashi, Ọkụzụ dị n'Anambara Steeti - ịtà

| | | |
|---|---|---|
| Nteje dị n'Anambara Steeti | – | ivo |
| Ikwuanọ dị n'Abịa Steeti | - | ufo |
| Ọhafịa | - | inu, ótîì |
| Ngwa | - | ufe |
| Ọlụ | - | nfo |
| Ọkịja | - | iho |
| Ekwulọbịa | - | iwo |
| Arọchukwu | - | iro |
| Enugwu, Achị na Ọgwụ na-akpọ ya | | iho |
| Mbaise na-akpọ ya ufe | | |
| Ụzọakọlị na Afikpo dị n'Ebonye | - | ilu. |

Ụfọdụ ndị na-akpọ yaifo, n'ihi ọrụ ọna-arụ. Ifo bụihe e ji ezuike n'abalị ma a rụchaa ọrụ ụbọchị. Ọ bụ ihe e ji eme mmadụ obi aṅụrị ma were kwa ya achụ ọbara mgbalielu n'ihi ọchị e ji ya akpa ndị na-ege ya.

**NNWALE ONWE 3**

1. Kedụ oge akụkọ ifo malitere na ndụ ndị Igbo?
2. Kedụ onye malitere akụkọ ifo na ndụ ndị Igbo?
3. Kedụ aha ndị obodo gị na-akpọ akụkọ ifo?

## 4.0 MMECHI

Agụmagụnwere ngalaba abụọ nke agụmagụ ọnụ so n'otu n'ime ha. Agụmagụ ọnụ n'akụkụ nke ya kewara ụzọ atọ nke gụnyere akụkọ ifo. Akụkọ ifo bụ ihe metụtakarịrị ụmụaka; mana nke apụtaghị na ọ bụ naanị ụmụaka ka ifo dịrị.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na yuunit a, e gosipụtara na mba Afrịka nwere agụmagụ tupu edemede abịa. A kọwapụtakwara n'akụkọ ifo so n'otu n'ime agụmagụ ọnụ ndị nwere nke bara oke uru.

## 6.0 IHE OMUME

Were ọmụmụaatụ doro anya goisputa na ndịIgbo nwere agụmagụ tupu edemede abịa n'ala Igbo.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Achọlọnụ, C.O. (n.d.) "The Igbo folktales as imaginative literature". In *Aṅụ (Ed.), A magazine of Igbo culture.* 1(3), 71 – 77.

Azuonye, C. (1987). Igbo Folktales and the Evolution of the Idea of Chukwu as the Supreme God of Igbo Religion, *Nsukka Journal of Linguistics and African Languages*, (1), 43-62.

Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition*. Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. PhD Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford UniversityPress.

Nnabuihe, C. B. (2005). *Nwaada Lọọlọ (Akwụkwọ Akụkọ Ifo Ndị Igbo).* Lagos: Ofonaogu Projects Africa Limited.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, U.I. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nigeria: Ifunanya.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nwadike, U.I. (2001). *Éké na Égwùrùgwù*. Ibadan: Heinemann Educational Books.

Nwadike, U.I. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature*). Onitsha: Africana Publishers Ltd.

# YUNIT 2 NJIRIMARA AKỤKỌ IFO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịnakpọmkwem
3.1 NjirimaraAkụkọ Ifo
3.1.1 Akụkọ ifonaokwu maọbụilu mbido na mmechi ya
3.1.2 Mmemmadụ n’akụkọ ifo Igbo
3.1.3 Asụsụ na usoro akụkọ ifo
3.1.4 Ebe emereme ifo na agwa ifo
3.1.5 Ihe ndị ọzọ e ji amara ifo Igbo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo nwere ọtụtụ ihe ndi e jiri mara ya nke mere o ji dị iche n’ụdị akụkọ ndị ọzọ dịgasị iche iche. Ụfọdụ n’ime ihe ndị ahụ e jiri mara akụkọ ifo ka anyị ga-elebanye anya n’ebe a.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enweike:

- gosipụta otu e si amalite ma na-emechikwa akụkọ ifo
- kọwapụta ụdị asụsụ e ji akọ akụkọ ifo na usoro e si ahazi akụkọ ifo
- gosipụta otu akụkọ ifo si eji mmemmadụ akwara ngwa ọrụ.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Njirimara Akụkọ Ifo

Akụkọ ifo nwere ụfọdụ ihe ndị e ji amata ha nke gụnyere usoro mmalite na mmechi, abụ/agụ ekwe, mmemmadụ dgz. A ga-esi n’ime akwụkwọ ọgụgụ e depụtara, chọpụta ihe ndị e jiri mara ifo Igbo were ya nye ọmụmaatụ.

### 3.1.1 Akụkọ Ifo, Mbido na Mmechiya

**Okwu Mbido**

Akụkọ ifo nwere okwu maọbụilu e ji amalite ya. A naghị malite banye n'ịkọ akụkọ ifo oge ụmụaka gbakọbara maka akụkọ ifo. Ọ na-enwe okwu ụfọdụ maọbụ ilu ndi e ji amalite ifo. Ọkọọ nwere ike malite ifo ya site n'ikwu:

'Ndị be anyị, o nwere akụkọ m ga-akọrọ unu'.

Ndị ogentị ga-azaso ya sị:

'Kọọrọ anyị ka obi dị anyị mma/kọọrọ anyị, anyị ga-ege ntị nụrụ ihe ị na-ekwu ma ọ dị ụtọ ma ọ dị njọ'.

Usoro a e si ebido ifo n'ala Igbo nwereike igbanwe site n'otu mpaghara ala Igbo, ruo mpaghara ọzọ.

E nwekwara ike iji ụfọdụ ilu wee malite akụkọifo

**Usoro Mmechi**

N'otu aka ahụkwa, ifo nwekwara okwu ndị e ji emechiya. Oge ụfọdụ ọ bụ okwu e ji ebido ya ka e ji emechikwa ya. Na ngwụcha akụkọ, ọkọakụkọ nwere ike sị- 'Iduu Hii' maọbụ 'Chakpii' ndị na-ege ntị azaa 'Hii'. Ọmụmaatụ: "Nwaanyigara ịkpa Ọkazi" *Nwaada Lọọlọ ji* – 'Atakpii!
Wọọọ!' dịka okwu mmalite ya; ebe "Nwankelu m" nke dikwa na Nwada Loolo jiri- 'Ifo Chakpii' na Hoo' wee mechie. Gbalisie ike chọpụtakwuzie ọmụmaatụ ndị ọzọ.

A ga-elebanye anya na nke a n'uju na Moduul 3, yunit 1.

**NNWALE ONWE 1**

1a. Kedụ aha obodo gị?
1b. Kedụ aha okpuru ọchịchị ọ di ̣n'ime ya?
1ch. Kedụ steeti ọ dị n'ime ya?

2a. Kedụ ka ndị obodo gị si amalite ifo ifo?
2b. Kedụ ka ha si emchi ifo?

3a. Foo otu ifo dị nkenke nwere usoro mmalite na usoro mmechi
3b. Gosipụta usoro mbido ifo ahụ
3ch. Gosipụta usoro mmechi ifo ahụ

### 3.1.2 M̀mèm̀madụ̀ Jụpụtara n'Ifo Igbo

Mmemmadụ jụpụtara n'ifo Igbo. Mmemmadụ dịka o si wee metụta agụmagụ pụtara iwere njirimara mmadụ maọbụ anụmanụ nye ihe abụghị mmadụ maọbụ anụmanụ. Naanị mmadụ (maọbụ anụmanụ) na-ekwu okwu, na-achị ọchị, na-ahụ ụzọ, dgz. Na mmemmadụa na-enye osisi, anụọhịa, anụụlọ na ihe okike ndị ọzọ agwa mmadụ. Ha na-ekwu okwu ka mmadụ, na-eche echiche ka mmadụ na-arụ ọrụ, na-agakwa ahịa ka mmadụ. Ha na-amụkwa nwa ka mmadu ma na-anwụkwa ka mmadụ dgz. Agwa na-adị n'ifo na-abụkarị ihe niile dị n'elu ụwa. Ọmụmaatụ:

*Ọka Mgba*, "Ihe mere Nkịta jiri bụrụ Anụ Ụlọ"
*Ọmalinze*, "Agụna ndị Inyom Ya"
*Mbediọgụ*, "Mbe na Amụma". Ọ bụrụ na ị lekwaa anya na ọmụmaatụ ifo dị na 3.2 n'elu, ị ga-ahụ na Agụ lụrụ ọtụtụ ụmụnwaanyị, nwe ndị ọ hụrụ n'anya ma nwekwa nke ọ kpọrọ asị mana ọ bụ naanị mmadu na-alụ nwaanyị.

**NNWALE ONWE 3**

1. Were otu ifo ị maara gosipụta ka mmemmadu si agba elu n'ifo ndi Igbo.

### 3.1.3 Asụsụ na Usoro Akụkọ Ifo

Asụsụ akụkọ ifo na-adịmfe ka ụmụaka wee nwee ike isonye nkeoma ma mụtakwa ihe ndị ha kwesiri isi n'ime ha wee mụta. A naghị ewebata okwu ndi tara akpụ na nghọta dịka ilu na atụmatuokwu ndị ọzọ. Ọzọkwa, usoro ifo na-aga sịrịrị werere, ebe ndị a kpọrọaha na ya na-adị olenole ka ụmụaka wee ghara inwe mgbagwojuanya. Ifo achọghị ahịrịokwu ndị toro oke ogologo na ndị gbara ngọrịngọ. A na-agbalịsikwaike ịhụ na ụhara ifo dị mpe. N'ihi n'ifo tobe oke ogologo, ụfọdụ ụmụaka nwereike malite ihi ụra ebe akọnauche ụfọdụ nwekwaraike ịpụ n'ihe a na-eme. Ọ bụrụ n'ifo amalite ito ogologo, e kwesịrị iwebata abụ maọbụ agụ-ekwe ka ụmụaka ndị chọrọ ihi ụra wee ghara ihi, ebe uche ndị nke akọnauche ha kpafuru ga-alọta. Ọ bụ n'ihi na ụmụaka bụ ndị hụrụ abụ n'anya nke ukwu. Akụkọ ifo ndi Igbo bụ akụkọ dị ofere, ma n'ọkụkọ ha ma n'usoro ihe niile gbasara ha. Ọmụmaatụ, "Mbe na Nduru" nke na-esotenụ.

**'Mbe na Nduru'**
O ruru otu mgbe, Mbe gwa nduru ka ha bụrụ enyi. Nduru wee kwere. N'echi ya, ha abụọ gaa n'agịgaọhịa wee mee ubi ebe ha kụrụ okpodudu na ede. Ma mgbe owuwe ihe ubi ruru, ha abụọ wee gaa chịkọta ihe ahụ niile kee ya n'ọba. Ogologo arọ ahụ niile ha na-ewere okpodudu na-eri. Ma mgbe ihe ahụ malitere ịgwụ n'ọba, Mbe wee were aghụghọ ka ha

sisịrị nri, sị “Tupu onye ọ bụla erie ihe a anyị siri, ya buru ụzọ kpọọ aha ya.” Nduru jụa Mbe ọ bụ n’ihi na ya na-asụ nsụ ka o jiri tie iwu a? Mbe kpọọ aha ya ozigbo, wee ribe nri. Nduru wee malite ịsị “Kpokpodudu, dukpo, ikpodu, kpodukpo, dudukpokpo.” Mbe sị ya na ọ kpọtaghị ya. Ka ọ na-agba mbọ ịkpọta ya, Mbe erichapụ nri zararam, hichaa ọnụ. O rue, oge ọzọ, ha sisịa nri Nduru wee sị Mbe, “Tupu onye ọbụla e rie ihe a anyị siri, ọ ga-ewere mmiri saa aka ya ma ọ gaghị ebi ya n’ala maọlị wee jee n’oche o ji nọdụ ala.” Nduru gaa ngwa saa aka ya, fegote n’oche, nọdụ, malite iri ihe.

Mbe wee jee ịsa aka; o wee welie anya na-ele enyi ya ka ọ na-eri nri n’ike n’ike. O were iwe saa asa ya; ma mgbe ọna-arịgota, o biela aka ahụ n’ala n’ihi na ọbụ ya ka o ji aga ije. Otu a ka o mere ọtụtụ oge ma o nweghị ike. O were iwe dị ọkụ jee nọdụ ala na-akwa akwa; Nduru erichapụ nri ahụ wee na-achị ya ọchị. Ụgwọ na ụgwọ wee tanaa.

Ọ bụrụ na i lee anya n’ifo a e jiri wee maa atụ, i ga-ahụta n’asụsụ ya dị mfe, o nweghi ilu maobu akpaalaokwu e webatara na ya. Usoro ya gakwara sịrịrị werere. Ahiriokwu ndi e ji wee foo ya dikwa nkenke. Ifo a etokwaghị ogo.

**NNWALE ONWE 4**

1. ‘A naghị ewebata okwu ndị tara akpụ na nghọta dịka ilu na atụmatụokwu ndị ọzọ’. Kọwaa nke a dịka o siri wee metụta Ifo Igbo.

### 3.1.4 Ebe Emereme Ifo

Ntọala Ifo na-abụkarị n’ala mmadụ, ala ụmụanụmanụ, ala mmụọ na eluigwe. Abịa n’ifo, isi n’otu ala gafee na nke ọzọ dị ezigbo mfe, n’ihi na mmadụ na-aga ala mmụọ lọtakwa n’otu ntabi anya. Nke a pụtara ihe n’akụkọ “Nwa Ka Nna” nke dị n’akwụkwọ *Nza na Obu* ia. 77 Ebe nna Nwa-ka-nna dugara ya ka ọ gaa kpụta oke ehi n’ala ndị mmụọ.

*Nza na Obu,* ih.akw. 5 (ala mmadụ)
*Nza na Obu,* ih.akw. 87 (ala ụmụanụmanụ)
*Ọmalinze,* ‘Etu Ọnwụ si bịa n’ụwa’ (eluigwe)

N’ifo ntọala ya bụ n’ala mmadụ, a na-egosị ka ndị mmadụ si ebi ndụn’ụwa. A na-enwe esemokwu ezinaụlọ nke ndị nwunye di na nwunye di, nwanne na nwanne, ọnọdụ nwa enwenne, nsogbu amụtaghị nwa nwoke, dgz. N’ụdị ifo dị etu a, a na-ahụ mmegbu, ịta ahụhụ, mkpọrọmasị, obi ọjọọ, nnupụisi, mana abịa n’ikpeazụ a na-enweta ihe nlekwasị anya nke bụ eziomume, maọbụ ezi ndụ maọbụkwa ezi ndụ. Ma ọ bụrụ n’ifo ahụ na-akụzi maka eziomume, a na-egosịpụta uru ọ bara ibi

ezi ndụ site n'igosị ụgwọ ọrụ onye eziomume nakwa nke onye ajọ omume.

Ọ bụrụ n'ala ụmụanụmanụ, akụkọ ụmụanụmanụ na-abụkarị ugogbe e ji ahụta ndụ ndị Igbo. N'ụfọdụ ifo, oke nsogbu ụmụanụmanụ na-enwekarị na-abụ ụ́kọ́ nri (ụganị/ụnwụ). Otu aka ahụkwa, ndi Igbo na-enwe ụkọnri, ụkọ mmadu, ụkọ ala, dgz. Mgbe ọbụla ụmụanụmanụnwere nsogbu ha na-akpọ nzukọ, tụkọọ aro ọnụ. Onye ọbula nwere ohere ikwu uche ya. Nke a bụkwa etu ọdị (n'ala) ndị Igbo.

Abịa n'akụkọifo ndi mere n'ala ụmụanụmanụ, ọ na-enwe ihe a na-elekwasị anya tupu ahọpụta ndị ọchịchị dịka eze. O nwere ike bụrụ anụ kachasị sie ike (dịka Agụ), kachasị nwe amamihe (Mbe), kachasị maa mma, onye a na-atụ egwu, dgz. Oge ụfọdụ Mbe na-aghọgbu ụmụanụmanụ ndị ọzọ wee bụrụ eze. N'ala Igbo, onye nwere ego mara ihe na-abụ eze. Ọmụmaatụ akuko "Ihe Mere Ọkụkọ jibụrụ Anụ Ụlọ" nke dị n'*Éké na Egwurugwu.* Ọkụkọ bụ eze ụmụanụmanụ niile. Anụ ndị ọzọ na-atụ ọkụkọegwu maka arụ̀ uhie uhie dị ya n'isi.

Abịakwa n'akụkọ "Ihe Kpatara Agụiyi anaghi anwụn'ime Mmiri" nke dịkwa n'*Éké na Egwurugwu,* Agụiyi bụ eze ụmụ anụ niile bi na mmiri n'ihi na ọ hụrụ onwe ya dị ka anụ dike. N'akuko "Otu Mbe si bụrụ Nna Ụmụ Anụmanụ" nke dịkwa n'*Éké na Egwurugwu*, ụmụanụmanụ niile mere Mbe eze ha n'ihi amamihe ya. Otu ahụ ka ọ dịkwa n'akụkọ "Otu Mbe siri bụrụ eze anụmanụ nke dị n'*Ọmalinze*.

Mmegbu na aghụghọ dị na ndụ ụmụ anụmanụ, nke bụ ihe e jiri mara Mbe. E nwekwara mmadụ bụ ndị mmegbu na ndị aghụghọ. Ka e si nwee Mba dịka onye aghụghọ, e nwere Ebule dịka onye akọ, nwee atụrụ ka anụ nzuzu. Etu a kwa ka e si enwe ndịma ihe nke ọma na ndị nzuzu na ndụ ndị Igbo. ihe ọbụla dị n'ala ụmụanụmanụ dị n'ala Igbo. Ụmụanụmanụ na-ekwu okwu, eche echiche, aga nzukọ, ekpe ikpe, egosị amamihe na nzuzu, mpako na obi ume ala, ịhụnanya na ịkpọ asị, anya ukwu na afọ ojuju, mgbalị na ume ngwụ, dgz. Dịka a na-ahụ na ndụ ndị Igbo. Ma na-enwekwa nnụnụ mgbama nke na-agba ama ihe a na-ezo ezo, dịka e siri nwee ndị mmadụ na-asị asịrị. I kwuo ụka dị aṅaa ebe ha nọ, ịmara na i ziela redio ozi mgbasa. Ya bụ, akụkọ ụmụanụmanụ bụ enyooku ndụ a na-ebi n'ala igbo/mmadụ.

N'ala mmụọ ndị mmụọ na-anwụ anwụ n'akụkọ ifo. A na-ahụ ha anya, ha na ndị mmadụ na-enwecha mmekọrịta dị icheiche. Ihe e jiri mara ndị mmụọ bụ mgba. Ha na-agba mgba oge ọbụla. Ọmụmaatụ, ifo a kpọrọ "Erem Ọka Mgba"n'*Ọka Mgba*.

Ọmụmaatụ ndị a niile gosiri na agwa ụmụanụmanụ n'ifo bụihe na-egosịpụta agwa ndị Igbo. Ha gosịkwawrа na ihe ọbụla nwere ike ime n'ifo.

**NNWALE ONWE 5**

1. Ntọala ifo nwereike ịgbadoụkwụ n'ala mmadụ, n'ala ụmụanụmanụ na n'ala mmụọ, were otu gosipụta ka nke a siri bụrụ eziokwu.

## 3.5 Ihe Ndị Ọzọ eji mara Akụkọ Ifo Igbo

Ifo bụ ekwurunọnụ. Ọ bụ n'ọnụ ka esi akọ akụkọ ifo, emebeghị ya ka ọ bụrụ ihe a na-agụ agụ; n'agbanyeghịna achịkọtala ọtụtụ n'ime ha n'akwụkwọ, iji wee chekwaba ha. Akụkọ ifo bụ akụkọ na-enwe ọkọo ̣na ogee. Na mmemme akụkọ ifo, ekwesịrị inwe onye gana-akọpụta akụkọ, ma nwekwazie onye maọbụ ndị ogee.

Ọzọkwa, o nweghị onye mara oge ọ malitere na onye malitere ya. Akụkọ ifo malitere oge ndị Igbo malitere ebimndụ ha. O nweghị onye nwereike ikwu kpọmkwem oge o mlitere. N'akụkụ nke ọzọ, onweghịkwanụ onye ga-asị na ọ bụ ya malitere otu akụkọ ifo maọbụ nke ọzọ. Ọ bụ ihe ọha obodo nwekọtara ọnụ. Ọrụ akụkọ ifo bụkwa maka ọdị mma na ọ ganihu ndị bi n'ime ya.

N'akụkọ ifo, ihe ọbụla nwereike ime n'akụkọ ifo; ihe ọbụla nwekwaraike ịbụ agwa n'akụkọ ifo. Oge eji akọ akụkọ ifo na-abụkarị n'oge abalị, ọkachasị oge ọnwa na-eti ka eji eme ya. Oge dị otu a bụ oge ndị mmadụ rụcharala ọrụ ụbọchị ha, wee na-ezuziike.

A na-enwekwa agụ-ekwe n'akụkọ ifo Igbo, a ga-eleba nke a anya n'uju na modul 4, yunit 1.

Njirimara akụkọ ọzọ bụ na n'akụkọ ifo a na-ewebata ihe ọma na ihe ọjọọ. A na-edebe ha n'ụzọ ga-adị kaa ga-asị n'ihe ọjọọ ga-elomi ihe ọma; ma n'ikpeazụ ihe ọma na-emeri ihe ọjọọ iji wee gosipụta nkwenye ndị Igbo n'ihe ọjọọ anaghị adigide, tinyekwa n'ihe ọjọọ ọbụla na-enweta ụgwọ ọrụ ọjọọ ebe ọrụ ọma na-enweta ụgwọọrụ ọma.

N'ikpeazụ, a na-esite n'ifo egosipụta nkwenye, ahụmihe ụwa, nsirihụ ụwa, omenala na usoro ebimndu ndị Igbo tinyekwara ihe ndi ọzọ.

## 4.0 MMECHI

Na mmechi, akụkọ ifo bụ ihe zuru mpaghara Igbo ọnụ. O nweghị mpaghara Igbo enweghị akụkọ ifo. Ihe nweziri ike ịdị iche site n'otu

mpaghara rue mpaghara ọzọ bụ usoro esi amalite ma na-emechikwa akụkọ ifo; agwa ndị mejupụtara ifo nwekwara ike ịgbanwe. Aha bụ akụkọ ifo na-agbakwa site n'otu mpaghara ruo mpaghara ọzọ dịka arụtụrụla aka. Olundi e ji akọ ya na-agbanwekwa site n'otu mpaghara ruo mpaghara ọzọ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na yunit ihe ọmụmụ a, e lebara anya n'ọtụtụ ihe ndị e ji amata akụkọ ifo.

## 6.0 IHE OMUME

1. Were ọmụmaatụ doro anya depụta ma kọwaa njirimara akụkọ ifo anọ ị maara.
2. Ihe di icheiche nwereike ime n' akụkọ ifo na abụghị ka ha si eme n'ụwa mmadụ. Were otu akụkọ ifo wee kọwaa nke a.
3. Gosipụta ka mmemmadụ si wee gba elu n'akụkọ ifo 'Agụ na Ndị Inyom Ya'nke dị n'ihu akwụkwọ 3.1.4 n'elu.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ufọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz &FodorAcademy.

Nnabuihe, C .B. (2005). *NwaadaLọọlọ: AkwụkwọAkụkọIfondị Igbo.* Lagos: OfonaOgu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké naÉgwùrùgwù: A book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ*. Onitsha: University Publishing Company.

# YUNIT 3 NKENỤDỊ IFO IGBO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
  3.1 Ụzọ dị icheiche e nwegasịrịike isi kewaa ifo Igbo
    3.1.1 Ifo Nkịtị
    3.1.1.2 Iduu Kpoo
  3.2 Nkenụdị gbadoro ụkwụ na NdịnaIfo
  3.3 Nkenụdịgbadoro ụkwụ n’etu esi akọ ifo
  3.4 Nkenụdị gbadoro ụkwụ n’agwa dị n’ifo
  3.5 Nkenụdị gbadoro ụkwụ n’ ọrụ ifo
  3.6 Nkenụdị gbadoro ụkwụ n’ebe emereme ifo
  3.7 Nkenụdị gbadoro ụkwụn’isiokwu
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Iheomume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

N‘iheọmụmụ yunit a, a ga-elebanye anya n’ụzọ dị icheiche e nwereike isi kewaa akụkọ ifo. N’ihi na e nwere ọtụtụ ụzọ e nwereike isi kewaa ifo dịka onyenkuzi/ ome nchọcha si wee chọọ. A ga-agbado ụkwụ n’usoro akụkọ si were na-apụta n’ọnụ ọkọọ, ọrụ ifo na-arụ, ndịna ya ndị dị ifo nakwa ifo ndị metụtara mbe wee mee nkewa ifo n’ihe ọmụmụ yunit a.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụsịihe ọmụmụ a, ụmụakwụkwọ ga-enweike:

- gosipụta ụzọ dị icheiche e nwereike isi kewaa ifo Igbo.
- kọwapụta ndịiche dị n’etiti ifo nkịtị na iduu
- kọwapụta ndịiche dị n’etiti iduu kpoo na idu nkịtị.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWEM

### 3.1 Ụzọ dị icheiche e Nwegasịrị ike isi Kewaa Ifo Igbo

Nkewa ifo pụtara ụzọ dị icheiche e nwegasịriike isi wee kewaa ifo. Nke a ga-enye aka iji wee mee ka nghọta n’ọmụmụ ya wee dị mfe. E nwebeghị nkwekọrịta ozuru mba ọnụ n’ụzọ enwereike isi wee kewaa ifo. Mana ndị odee, ndị ọrụ nchọcha na ndị ọkammụta dị icheiche agbalịara n’ụzọ dị icheiche ime nkewa akụkọ ifo n’ụzọ dịgasị icheiche.

N'agbanyeghị nke a, enwebeghị otu ụzọ kpọmkwem e nwereike ịsị na ọbụ ya kachasị mma; kama ọ bụ ọrụ dịrị onye nkuzi maọbụ ome nchọcha ịhọrọ ụzọ o chere kachasị mma iji wee mee ka nkuzi ya gaa nke ọma maọbụ mee ka nchọcha ya gaa nkeọma.

Okpewho (1992: 181-182) kọwara na-enwere ụtọ anọ enwereike isi wee kewaa akụkọ ifo mba dị icheiche. Ha bụ ndị a:

i. ***N'igbado ụkwụ n'agwa ndị kara gbaa elu n'ifo:*** Ọ bụrụ na nke a mee, a ga-enweta ụdị ifo ndị a akụkọ ụmụanụmanụ, akụkọ ụmụmmadụ, naụmụmmụọ. Okpewho chọputara na n'ịgbado ụkwụ n'agwa ndị kara apụta ihe n'ifo wee mee nkewa ifo nwere nsogbu nke bụ n'otu agwa nwereike ịkpa agwa dịka agwa ọzọ. Ọmụmaatụ, ụmụanụmanụ, n'akụkọ ifo ụmụanụmanụ nwere ike na-eche echiche ka mmadụ. Ha nwekwaraike igosi ịhụnanya; ịkpọasị; anyaukwu; obiọma dgz dịka mmadụ si eme. Nsogbu ọzọ ọ chọpụtara n'ụdị nkewa a bụ na e nwere ifo ebe a na-enwe ngwakọrịta agwa.

ii. N'igbado ụkwụ na ebumnobi/ndịna akụkọ; ma ọ gbara elu ma o zoro ezo. Ọ bụrụ na-agbado ụkwụ n'ụdị awee kewaa ifo, a ga-enweta- ifo ndị na-akuzi eziomume.

iii. N'igbado ụkwuụdịdị ifo. N'ụdị nkewa dị otu a, a na-enweta- ifo aghụghọ, ifo amakeme/mgbagwojuanya (n'ụdị ifo amakeme, a na-enwe nsogbu/ajụjụ/mgbagwojuanya a tụrụ anya na ndị ogee na ọkọọ ga-etinye ọnụ na ya wee nweta ụsa nye ya), akọmakọ agụgụala, usoro ọmụmụ, nkọkịrịkọ, akụkọ dike/odogwu, dgz.

iv. Akụkọ mmalite (origin tales). Ndị a na-akọwa ka ụfọdụ ihe dịka ọnwụ, ọkụ, ekpemekpe na ihe ndi ọzọ si wee malite n'ụwa.

    Okpewho, gakwara n'ihu ịkọwa na-enwekawara ike igbado ụkwụ n'ebe emeremere ifo wee mee nkenuụdị ifo. Ọ bụrụ na nke a mee, a ga-enweta ifo egwu ọnwa, akụkọ ifo agbamafa na akụkọ ifo achụmnta, dgz.

Nwadike (2001: xiii) n'akụkụ nke ya, kọwara na-e kere akụkọ ifo ndi Ojii ụzọ ano:̣ ha bụ ndị a:

i. Ndị bụ amakeeme maọbụ ndị na-ebute mgbagwojuanya (dilemma tales).

ii. Ndị bụ akụkọ Mbido- ndi ̣na-akọwa ihe kpatara ihe di iche iche ji eme (Myths or 'Why' Tales)

iii. Ndi na-akuzi ihe, ya bụ, ndị e si na ha amụta ihe (Moral/Didactic Tales)

iv. Akụko ̣Mbe/Aghụghọ (Trickster Tales).

N'iheọmụmụ a, anyi ga-elebanye anya n'ụfọdụ ụzọ e nwereike isi wee kewaa ifo nke a tụru ̣anya n'onye ọbụla na-eme ihe ọmụmụ akụkọ ifo

n’ogogo a kwesịrị ịma. Ụfọdụ ụzọ e nwereike isi wee kewa akụkọ ifo gunyere ụzọ ndị a na-esotenu:

- Etu ifo si apụta n’ọnụ ọkọọ.
- N’ịgbado ụkwụ na ndịna (content of each tale) dị n’akụkọ ifo.
- Ebe a kọrọ akụkọ /ala emereme.
- Agwa dị n’ime ifo ahụ.
- Site n’isiokwu dị n’ifo
- N’ụdị ọrụ ọ na-arụ.

**NNWALE ONWE 1**

1. N’uche nke gị o nwere ụzọ ọzọ e nwereike isi wee kewaa akụkọ ifo nke na-adịghị na ndị a edepụtara?
2. Depụta ụzọ dị otu ahụi chere e nwereike isi wee kewaa ifo Igbo.

### 3.1.1 Ifo Nkịtị na Iduu

Abịa n’otu akụkụ, akụko̩ ifo kewara onwe ya ụzọ abụọ. Ha bụ ‘ifo nkịtị na iduu. Ifo nkịtị bụ akụkọ ifo na-akọwa maka ụmụanụmanụ - *Nza na Obu*. Tinyekwara ihe ọdịnachi ndị ọzọ dịka osisi, ugwu, ndagwurugwu, ọhịa, ala, igwe, mmiri dgz. Ọ bụ akụkọ ifo ọdịnala nke e jiri mara ndi Igbo malite n’oge ha malitere obibi ndụ ha. Ọ bụ nke na-enweghị ngwakọrịta n’akụkọ ifo mba ndị ọzọ.

N’akuḳụ nke ọzọ, akụko̩ iduu, e nwekwaraike kpọọ ya akụkọ iduunaọba dịka Nnabuihe (2005: viii) si wee kọwaa bụ akụkọ na-arụtụ aka “n’ụdịri̩ akọmakọ ndi na-ekwu maka obodo iduu na eze na-achị ha nke a na-akpọ ọba”. Ihe kpatara e ji akpọ ya akụkọ iduu bụ na ọ bụ akọmakọ gbasara obodo iduu na onye na-achị ha bụ ọba. Akụkọ iduu gbadoro ụkwụ n’ahụmihe ndị Igbo mere njembiri rute obodo Edo mgbe gboo. Akụkọ iduu kewara onwe ya ụzọ abụọ, ha bụ Iduu kpoo na iduu nkịtị. Ihe eserese a na-esonu ga-enye aka kọwapụta ya nkeọma-




### 3.1.2 Iduu Kpoo na Iduu Nkịtị

Dika anyị kwurula, akụkọ iduu kewara ụzọ abụọ. Ha bụ iduu kpoo na iduu nkịtị. Anyị ga-eleba ha anya n’otu n’otu.

**Ifo Iduu Nkịtị**

Iduu nkịtị bụ akụkọ ifo na-akọ maka eze anaghị achị ọchịchị nchịgbu. Ọ na-alụ ọtụtụ ụmụnwaanyị mana o nwekwara ike nwee nke ọ kpọrọ asị n'ime ha. Ọ na-achọkarị ịmụta nwa nwoke. Ọ na-eme ihe dị iche iche iji mụta nwa nwoke. Ọ bụ nwaanyị nke ọ kpọrọ asị ga-emechaa mụtara ya nwa nwoke ahụ ọ na-achọ. Iduu nkịtị na-enwerịrị otu maọbụ karịa na njirimara ndị a: eze lụrụ ọtụtụ nwaanyị ma kpọ otu n'ime ha asị na-enweghị ihe doro anya o mere, achọmọmụmụ nwoke, agwọmọgwụ, agbambọ igbochi mkpọrọmasị nwaanyi ịbụ ya mụtara nwoke ahụ a na-achọ, etimiwu ka e tufuo nwanwaanyi ọbụla a mụtara ma kulata nwanwoke, na mpọrọmasị ịmụta nwanwoke n'ikpeazu; e tufuo ya mechaa chọtakwa ya. Ọmụmaatụ:

Akụkọ a kpọrọ "Ọmalinze" nke dị n'akwụkwọ akụkọ ifo *Ọmalinze*.

**Iduu Kpoo**

Akụkọ iduu kpoo bụ akụkọ ifo na-akọwa maka eze na-achị ọchịchị nchịgbu. Ọ na-enwe ndị na-arụrụ ya ọrụ ọjọọ dịka Mgbaraọtọ, Ogbungwangwa, Ọraọbara na Afọejuala. A na-enwekwa odogwu mmadụga na-ama Ọba ahụaka n'ihu n'ihi ihe ọjọọ na-eme n'obodo. Ọba ga na-achọ ụzọ ọ ga-esi gbuo odogwu ahụ. O nwere ike zipụ odogwu ahụ njemegwu ebe ọga-eche na ọ ga-eje nwuọ; n'hi na ọ bụrụ na eze egbuo ya ndị obodo ga-ama na ọ bụ ya gburu ya.

Odogwu ahụ ga-eje njemegwu ahụsite n'enyemaka ndị obodo nakwa ihe ndị dibịa ga-enyekwa ya ihe ga-edu ya dịka *Okpurunwaeke, nzu, enyoonyoahụ, na mmagha.* Ọ ga-aga njemegwu ahụ ma lọta n'udo, bịa chibazie ndị obodo ya ma ọbụrụna eze kwere ya nkwa na ọ lọta n'udo na ọ ga-apụrụ ya n'oche eze ya.

N'akụkọ iduu kpoo, ọba na-e nwe ndị na-arụrụ ya ọrụ ọjọọ, ha gụnyere ndị a: mgbaraọtọ, ogbungwangwa, ọraọbara na afọejuala.

- Mgbaraọtọ bụ ndị na-eche ọba nche.
- Ogbungwangwa bụ ndị na-ahụ na o nweghi onye gbaghara Ọba okwu.
- Afọejuala bụ ndi na-eje na nzuzo lie maọbụ tufuo ozu onye maọbụ ndị e gburu n'ihi ịgbaghara Ọba okwu.
- Ọraọbara bụ ndị ọrụ ha bụ ikwu ihe ọma dum ha nwereike gbasara Ọba, iji zipụta ya dịka ezigbo mmadụ.

Iduu kpoo n'akụkụ nke ya na-enwerịrị otu maọbụ karịa na njirimara ndị a: onyeọchịchị na-achị ọchịchị akaike maọbụ ọchịchị nchigbu, odogwu, amamaka, njemegwu na mgbanwe ọchịchị. Ọmụmaatụ, "Ènèndụ Ìgbòànụgo, Nwa Ká Nnà Ya" *(Ọmalịnze*ih.akw. 22).

Na nchịkọta, iduu, maọbụ iduu kpoo maọbụ nke nkịtị na-eto ogologo tokarịa ọtụtụ ifo ndị Igbo nwebuuru. N’akụkụ nke ọzọ, dịka Nnabuihe (2005: viii) sii wee kwuo, “Ma iduu kpoo ma iduu nkịtị na-adị ka ihe mere eme n’ezie mana ọ pụghị ime na ndụ ọdịnala ndị Igbo”. Ọ bụ nke kpatara n’oge ọbụla a kọọrọ onye Igbo ihe edoghi ya anya maọbụ ihe rara ya ahụ na nghọta maọbụ na na i kwenye na ọbụ eziokwu maọbụ asị, ọ na-ezipụta ekweghị ekwe ya n’ụdị ekwurekwu a: ‘ihe a dịkwa akụkọ iduunaọba’.

**NNWALE ONWE 2**

1. Depụta ma kọwaa otu ọkpụrụkpụ ndịiche dị n’etiti ifonkịtị na iduu.
2. Kedụ ụdị ifo e jiri mara ndị Igbo n’oge ha malitere ebimndụ?
3. Chọpụta otu ọmụmụaatụ maka akụkọ iduu kpoo nakwa akụkọ iduu nkịtị na-abụghị nke e nyeregị dịka ọmụmụatụ site n’akwụkwọ ndi e wepụtara gị iji wee mụọ ihe.
4. Kedụ n’ụdị akụkọ ifo ebe a na-enwe ọba?
5. Kedụ n’ụdi akụkọ ifo ebe ọchịchị na-esi n’ezinaụlọ eze gaa n’ezinaụlọ ọzọ?
6. Kedụ ọrụ ọraọbara n’akụkọ iduu kpoo?

## 3.2 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụ na Ndịna Ifo

**A. Echenomere**

Echenomere na-akọwa maka ihe ndịdịiche a na-eche na ha mere eme n’ifo n’ezie, mana ha meghị; naanịihe e jiri kọọ ha bụ iji kuzie ihe.

N’aka nke ọzọ, o nwekwara ike bụrụ akụkọ mere eme mana e ji ihe ndị ekwesịghịime na ndụ maọbụ ihe abụghị etu o siri dị na ndụ wee gosịpụta ya (Ihe dịka n’okike ụwa, e gosịpụtara ụfọdụ ihe dị n’ụwa jiri dị etu ọ dị, dgz.)

N’ebe a, anyịga-elebanye anya n’akụkọ Ya mere, nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ.

**i. Akụkọ Ya-Mere (Aetiological tales)**

Akụkọ ‘Ya-Mere’ bụakụkọ na-akọwa ihe kpatara ihe jiri mee maọbụ ihe kpatara ihe jiri dị etu o dị n’ụwa. Akwụkwọ *Éké na Égwùrùgwù* (A Book of Igbo Aetiological or ‘Why’ Tales) nke Inno Ụzọma Nwadike bụ naanị akụkọ ‘Ya-Mere’ jupụtara n’ime ya. Ọmụmaatụ ndị ọzọ gụnyere ndị a:

“Ihe Mere Nwa Ologbo Ji Eri Oke” *(Ọmalịnze);*
“Ihe Mere Nkịta Jiri Bụrụ Anụụlọ” *(Ọka Mgba);*

“Nwa Nta na Nnụnụ Ya” *(Ọka Mgba)*. Akụkọ a kọwara ihe mere ntịmmadụ ji dịbele bele;
“Ihe Mere Egbe ji eburu Ọkụkọ” (*Nza na Obu)*.

**ii. Nkọmịrịkọ (Myth)**

Nkọmịrịkọ na-akọwa maka okike ụwa, ọnwụ, ndụ, nakwa okike ihe niile ndịọzọ na-abụghị mmadụ maọbụ anụmanụ. Ọ na-akọwakarị maka ndụ, ọnwụ na ihe ọdịnachi ndị ọzọ. Nkọmịrịkọ metụtara ofufe, nke a mere e ji ekwu mgbe ụfọdụ na nkọmịrịkọ dị asọ. Ọ na-arụtụ aka n’ihe gbasara epumepu ụwa, okike eluigwe na ụwa, ọnwuna ndụ, nakwa okike ihe niile ndi ọzọ na-abụghị mmadụ maọbụ anụmanụ. Nkọmịrịkọ na-emetụta ihe dị nnukwu mkpa dịka ọbịbịa ọnwụ n’ụwa na ihe omimi gasị dịka ndọrọndọro eziihe na ajọihe, ìhè na ọchịchịrị, dgz.

Ndi na-ewebata nkọmịrịkọ n’akụkọ ifo Igbo iji akọwa ihe ọbụla taara ha akpụ nghọta. Iji maa atụ, ebe ọbụ na ha aghọtaghị ụdịdị kpakpando na ọnwa nke ọma, ha nwere ike mewe nkọmịrịkọ gbasara ha. Nke a mere e ji ahụna ndị ọbụla n’ụwa nwere akụkọ dị iche iche ha ji akọwa ọtụtụ ihe e nwere n’ụwa. E nwere ndị nwere akụkọ gbasara ihe e ji nwee oyi na oge ekpomọkụ, ihe mere e ji nwee mmiri maọbụ ndagwurugwu ebe ụfọdụ. Ọmumaatụ:

“Etu Ọnwụ si Bịa n’ụwa” (*Ọmalinze)*.

**iii. Nkọkịrịkọ (Legend)**

Nkọkịrịkọ na-akọwa maka odogwu dị iche iche, akpamike mmadụ/anụmanụ kpara mere onye ahụ jiri bụrụ onye a mara amara maọbụ odogwu mmadụ. Odogwu a nwere ike bụrụ onye a mara amara na mgba, onye jere njemegwu lọta n’udo, onye a mara amara n’aghụghọ dịka mbe maọbụ anụkambeakọ. A na-ewebata akụkọ nkọkịrịkọ n’akụkọ ifo Igbo iji wee kuziere ụmụntakịrị mkpa ọ dị mmadụ ịbụ dike, ghara ịbụ onye ụjọ. Nkọkịrịkọ na-apụtakarị ihe n’akụkọ iduu kpoo dịka e kwurula n’oge gara aga. Ọmụmaatụ: ‘Udeze’ na *Nza na Obu*.

**B. Ifo Na-akụzi Ezi Omume (Didactic Tales)**

Nke a bụ ifo na-akuziri ụmụaka uru dị na mmadụ ime ezi omume nakwa ọghọm dị n’ajọ omume. N’ụdị ifo na-akuzi eziomume; igosipụta mkpa ọ dị mmadụ ime eziomume bụ ihe na-apụtakarị ihe n’ime ha. Nke a apụtaghị na onwere ifo ndi kwesịrị ikuziri ụmụaka ajọomume; kama akụkọ ndị na-adị n’ụdị ifo ndị a na-aka egosipụta agwa eziomume n’ebe ọ gbara elu. Ọmụmatụ:

"Anụ tụrụ agwa ga-alụ analụ" (*Ọmalinze)*. Ụdị ifo na-akuziri ụmụaka mkpa inwe obiebere na-ebe mmadu ibe ha dị. Elebakwuru anya n'oru nkuzi ifo na-aru na Modul 2, yunit 2. Gbaa mbọ chọpụta ọmụmaatụ ndị ọzọ.

**Ch. Ifo Aghụghọ bụ nke Mbe Na-abụkarị Onye Isiagwa na Ya**

Àgwà ndị na-agbakarị elu n'ụdị ifo a bụ agwa ndị n'egosipụta aghụghọ. Ifo ndị dị otu a na-enwekari agwa mbe n'ime ha n'ihi na mbe bụ onye eji aghụghọ wee mara n'akụkọ ifo ndi Igbo. Nwaike (2001: xvi), kpọrọ ya 'akụkọ mbe maọbụ 'aghụghọ'. Ọ kọwara na ọ bụghị naanị n'ụdị ifo a ka a na-enweta akụkọ mbe; kaama, na-ekewapụtara nke a iji gosi nke ọma ọnọdụ mbe na ụmụ anụ ndị ọzọ. Nwadike kọwakwara naEbule Akọ bụkwa anụ ọzọ akọ na uche ya na-aghọ 'zamzam' tinyekwara anụ ndị ọzo, kama na nke Mbe enweghị nke aga-eji tụnyere ya.

Ọmụmaatụ: "Mbe na Nwunye ya na Ọnwụ Nne ya" (*Mbediọgụ)* na "Mbe na Anụkambeakọ" dị n'*Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*.

**Mbe na Anụkambeakọ**

Otu mgbe Mbe chekatara otu ọ ga-esi ghọgbuo Ewi, o wee kpọ ya oriri n'ụlọ ya. Tupu Ewi abịa, Mbe gwara nwunye ya ọma ka o teere Ewi ofe ọkwụrụ nke a ga-etinyekwa ogwu azụ na ose ebe ọ di ukwuu. Ụzọ ihe atọ ndị a ga-enye aka ime ka Ewi nwụọ n'ụlọ Mbe ka ya na nwunye ya na ụmụ ya wee rie anụ Ewi. Ọkwụrụ ga-eme ka ogwu azụ gbafee Ewi n'akpịrị ngwa ngwa. Ọkpara Mbe ga na-akpara Ewi ụbụbọ mgbe ọ na-eri ihe ka ose wee kụọ ya akụkụ. Mgbe ọnọ na-akwa ụkwara, ogwu azụ ga-agbakoro ya n'akpịrị. Ọ dịghị mmiri ọbụla a ga-ekunye Ewi mgbe ọ ga-akwa ụkwara ihe gbakooro ya. Nke a ga-eme ka ọ kwakata ụkwara, mkpụrụ anya ya abụọ azọpụtachaa, ọ tụbọọ, wee nwụọ, wee ghọọrọ Mbe na ndị ụlọ ya ihe oriri.

Mgbe o ruwere oge Ewi ga-eji bịa, Mbe pụọ ga zoo n'azụ ụlọ, gwa Ọkpara ya ka o zie Ewi ka ọ malite iri ihe na ya gara na nkwụ, na ya ga-alọtakwa tupu Ewi erichaa ihe. Mgbe Ewi rutere, ọkpara Mbe ezie ya ihe e ziri ya. Ebe ọ bụ anụ ka Mbe aghụghọ, ọ matara ihe Mbe na-aghọ. Mgbe ọ na-aga iri ihe, o were nwayọọ na-edetụ ụtara n'elu ofe na-elo. Mgbe nwunye Mbe hụrụ ihe na-aga, o wee were eku kpagharịa ofe ahụ sị Ewi ka ọ na-agbata ihe dị n'ofe na ọbụ ya nwe ihe dum. Ewi wee kelee ya ma chere ka ihe dị n'ofe gbadachaa n'ala ite ofe. Mgbe ọ na-achọ ikele ọma, ose kụrụ ya akụkụ nke nta. O wee maba aka n'akpa ya wepụta okuko mmaị ya gbara mmaị n'okpokoro (mbele) mmaị o bu bịa ṅụọ, akụkụ wee kwụsị. Ewi mee ngwa ngwa kwọọ aka ya, kelee Ọma na ụmụ ya, gwakwa ha ka ha kelee nna nwe ụlọ ma ọ lọta na nkwụ; sị kwa ha zie ya na ya alaala, na ha ga-ahụ ụbọchị ọzọ.

Mgbe Ewi laruru ụlọ ya o chepụta ụzọ ọ ga-eji gosị Mbe na ya bụ Anụkambeakọ. O wee zie Mbe ka ọ bịa oriri n'ụlọ ya n'ụbọchị Eke. Mbe wee kwere ije. Mgbe nwunye Ewi techara ofe, Ewi gwa ya ka ọ dọba ite ofe n'ebe ite ọdụdọ na-adị ka ofe wee jụzie oyi nke ọma. Mgbe nke a mechara, Ewi wee zie nwunye ya ihe ọ ga-eme tupu Mbe abịarute. Ọ gbatara akpụkpọ ọkụkọ e siri esi nye nwunye ya ka o wee kechie ya. Mgbe Mbe bịarutere, nwunye Ewi ga-afụchi di ya n'akpụkpọ ọkụkọ ahụ e siri esi, wee tiba ya n'ofe ahụ jụziri oyi bupụtara Mbe, gwa ya ka ọ malite iri ihe n'ihi na Ewi jere ndị ọgọ ya ịchọta mmaị a ga-eji lee Mbe ọbịa; na mgbe o richara ihe, ya gụrụ anụ ọkụkọ di n'ofe mịchaa; ya bọwa ya na-atatụ anụ ya tutu ya alọta. Ofe nwunye Ewi tere dị ụtọ nke ukwu. Mbe chere na a ga-etere ya ofe ose na ogwu azụ, ma ọ bụghị otu a. Mgbe Mbe ratụrụ ofe ahụ, ya toọ ya, ose adịghị ya, ogwu azụ, adịghịkwa ya ọ malite imalo ihe niile na-achị Ewi na nwunye ya ọchị na ya aghọgbuole ha ụbọchị ahụ.

Mgbe Nwa Alilịụga richara ụtara rijuo afọ ya, ọ gụrụ ihe dị n'ofe mịchaa dịka a gwara ya. Ma mgbe ọ gara ịmicha anụ ahụ, Ewi amaba ya n'afọ, wepụta agụwa o ji, wee malite ighekasị Mbe eriri afọ. Mbe wee malite iti mkpu akwa. Ewi malite ịchị ya ọchị wee sị Mbe kwete ya ihe ọ ga-enye ya ka ya hapụ igbu ya. Mbe wee kwete Ewi ewu atọ tupu o si n'afọ Mbe pụta. Mbe enwekwaghị ọnụ okwu ọzọ.

Mgbe Ewi bịara ịkpụru ewu ndị ahụ, Mbe were ụzọ aghụghọ jụwa ya otu o si banye n'ite ofe ahụ. Ewi wee sị ya gbata akpụkpọ ọkụkọ nye nwunye ya ka o were kechie ya nke ọma. Na mgbe ofe dị n'elu ọkụ na-asụ "gbaghaa, weta, gbaghaa, weta", na mgbe ahụ ka nwunye ya ga-asụba ya n'ite ofe.

Mgbe otu izu gafechara, Mbe wee sị Ewi ka ọ bịa oriri n'ụlọ ya ọzọ. O wee zichaa nwunye ya bụ Ọma otu a ga-esi tụba ya n'ofe mgbe ọ sụwara n'ọkụ; na otu ọ ga-esi zie Ewi ka ọ gụrụ ihe dị n'ofe mịchaa, bọkasịa na-ata tutu ya alọta inyi nkwụ. Mgbe ofe sụwara "gbaghaa, weta, gbaghaa, weta" Ọma wee kechie Mbe sụba n'ite ofe. Ngwa ngwa n'otu ntabi anya ahụ, Mbe nwụọ n'ime ite ofe ahụ na-ekwupụghị okwu n'ihi na e ji akpụkpọ ọkụkọ kechie ya ma imi ma ọnụ. Ma mgbe e kechiri Ewi, a hapụtụrụ nwa ebe o si ahụ ụzọ na-ekukwa ume. Mgbe Anụkambeakọ bịaruru richaa ụtara, ọ gụrụ ozu Mbe ghechalararị eghe mịchaa, were aka efu lịakasịa Mbe na-ata anụ ya. Mgbe o richara ọ para isi Mbe panye nwa Mbe nke nta. Mgbe o mechara nke a, ọ dapụ ezi ngwa ngwa, ga Ọma na ya alawala ngwa ngwa n'ihi na mmiri na-eji. Ọ gwakwa ya ka o kelee di ya ma ọ lọta na nkwụ. Mgbe Ọma pụtara ịpara ihe Ewi rifọrọ, ọ hụebe nwa ha nke ntakịrị pa isi di ya n'aka na-akụkụrị nwa anụ dị n'isi Mbe, ebe ọ mataghị na ọ bụ isi nna ya. Ọma wee tie mkpu akwa, daa n'ala, tụbọọ. Mgbe ndị agbataobi ha gbatara, Ọma ahụghị ọnụ o ji akọrọ ha ihe mere. Ọ bụrụ na Anụkambeakọ aghọgbuole Mbe onye isi aghụghọ.

**D. Ifo bụ Naanị Njemegwu (Adventure)**

Ifo bụ naanị njemegwu bụ ụdị ifo na-egosipụta njemegwu n'ụdị dị icheiche. A na-ahụkarị ụdi ifo a n'akụkọ iduu kpoo, ebe a na-enwekarị njemegwu.

Ọmụmaatụ: "Ènèndụ Igboanụgo, nwa ka nna ya" (*Ọmalịnze)*. (Gbaa mbọ chọpụtazia ndị ọzọ).

**NNWALE ONWE 3**

1. Were ahịrịokwu ise gosipụta ndịiche dị n'etiti nkọkịrịkọ na nkọmịrịkọ dịka ụdị akụkọ ifo Igbo e nwere.
2. Kedu agwa ndị na-akachasi agba elu n'ifo aghụghọ.
3a. Kedu n'ụdị ifo, ifo bụ naanị njemegwu n'agbakarị elu?
3b. Kedu ihe kpatara ifo bụ naanị njemegwu ji agbakarị elu n'ụdị ifo dị etu ahụ?

## 3.3 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụ n'Etu E Si Akọ Ifo

E nwekwaraike ime nkenụdị ifo n'igbado ụkwụ otu ifo ahụ si apụta n'ọnu ọkọakụkọ. Ọ bụrụ na nke a mee a ga-enweta ụdị ifo atọ ndị a:

- Ifo Naanị/Akọmakọ naanị
- Abụsoifo
- Abụbụifo

**Abụbụifo**

Abụbụifo na-akọwa maka ifo bụ naanị abụ maọbụ ukwe. Ihe nke a pụtara bụ na site na mmalite ruo na njedebe ifo, ifo ahụ ga-abụ naanị abụ. Ụdị ifo ndi a, na-adị n'ụdị abụ. N'ụdị abụ ka akụkọ ifo dị otu a ga-esi apụta wee ruo na njedebe ya. *Ọmalinze* 'Nwakatimkporo'na "Mbelembe Di Ya" dị na *Nwaada Lọọlọ.*

**"Mbelembe Di Ya"**

| | |
|---|---|
| Agawakwa m n'ụzọ … | O mbelembe di ya |
| Agawakwa m n'ụzọ … | O mbelembe di ya |
| M gakwuru nwokoro … | O mbelembe di ya |
| Ebe ọ nọ n'obi ya apị atụ … | O mbelembe di ya |
| M sị ya pịakwa ka ị nyetụ m … | O mbelembe di ya |
| Ya sị m gachaa m pụta … | O mbelembe di ya |
| M garachaa m pụta o … | O mbelembe di ya |
| Ya sie nwa ikpo ụtara dowe … | O mbelembe di ya |
| Ya ghee nwa ikp anụ dowe … | O mbelembe di ya |
| M ririchaa nwanri m … | O mbelembe di ya |
| M mapụta nwa mbara ezi o … | O mbelembe di ya |
| Ya sị ụmụ agbọghọbịa ugbua … | O mbelembe di ya |
| Unu bụ eluigwe na-ezo mmiri … | O mbelembe di ya |
| Unu zochaa ụnụ gbachaa … | O mbelembe di ya |

| | |
|---|---|
| M sị ya ma ụmụkọrobịa ugbua… | O mbelembe di ya |
| Unu chọwa nkwụna-agba mmanya… | O mbelembe di ya |
| Unu sere mbele kpuo ọhịa … | O mbelembe di ya |

Ọ bụrụ n’ile anya n’ọmụmaatụ a dị n’elu, ịga ahụ n’ọbụ akụkọ mana ọ pụtara n’ụdị abụ.

**Abụsoifo**

Abụsoifo na-akọwa maka ifo na abụ; e fotu ifo, a bụtụ abụ maọbụ e kwetu ukwe. Ụdị ifo a na-amasị ụmụaka nke ukwu n’ihi na ụmụaka bụ ndị hụrụ ukwe n’anya. Ọmụmaatụ: *Nza na Obu* ‘Ihe mere egbe ji eburu ọkụkọ’na “Nwaanyi Gara Ịkpa Ọkazị” nke dị na *Nwaada Lọọlọ.*

**Nwaanyị Gara Ịkpa Ọkazị**
**Atakpii!**
**Wọọọ!**

Otu mgbe, otu nwaanyị mụtara otu nwa. Ọrụ nwaanyị a na-arụ bụ ịga n’ọhịa weta ihe ọbụla dị n’ọhịa dịka nkụ, ọkazị, eju na ihe ndị ọzọ, ree ha. O ruo otu ụbọchị, ya na nwa ya ejee ọhịa ịkpa ọkazị. Mgbe hie niile ha jiri gaa juru, nwa ya kpọrọ ya, sị yaka ha lawa na ihe niile ejula, nne ya ekweghi. Ha kpagidere ọkazị ruo n’ala ndị mmụọ, ụmụmmụọejide ya jụọ ya ihe ọchọrọ bịa n’ala ha. Ọ sị na ya bịara ịkpa ọkazị. Ụmụmmụọ gbara izuzu sị na ha ga-egbu ya, ma ha ejideghị nwa ya. mgbe ha chọrọ igbu ya, nwa ya amalite bewe akwa, sị:

| | |
|---|---|
| Ọ kwa ụnụ egbuwele nne? | Owee nne |
| Ọ kwa ụnụ egbuwele nne? | Owee nne |
| Mụ asị nne ka anyị laa | Owee nne |
| Nne sị m cheretụ | Owee nne |
| Cheretụ egbuola nne | Owee nne |
| Nne nne | Owee nne |

Ụmụmmụọ wee gbuchaa nne ya, siwe ya. Nwa ya ebewekwa akwa, sị:

| | |
|---|---|
| Ọ kwa ụnụ esiwele nne? | Owee nne |
| Ọ kwa ụnụ esiwele nne? | Owee nne |
| Mụ asị nne ka anyị laa | Owee nne |
| Nne sị m cheretụ | Owee nne |
| Cheretụ egbuola nne | Owee nne |
| Nne nne | Owee nne |

Mgbe ha sichara nne ya tawa anụ ya, ha nyere ya ụfọdụ anụ ahụ. Mgbe ọ jụrụ ịnara taa, ha sịrị ya:

| | |
|---|---|
| Chei! Anụ nne gị dị ụtọ | Chakwụrụ cha |
| Anụ nne gị dị ụtọ | Chakwụrụ cha |

O wutere nwa ahụ nke ukwuu etu ndị mmụọ siri gbuo nne ya, rie. Ọ nọ na mwute ahụ, ndị mmụọ ahụ niile erichaa anụ nne ya, ghasa ọkpụkpụ ya ebe ahụ lasaa. Otu ọkpọka dibịa mmụọ hụrụ nwa nwaanyị ahụ n'ọnọdụ mwute ahụ wee meere ya ebere. Dibịa mmụọ ahụ weere ike amịrịmaọgwụ ya chịkọta ọkpụkpụ ahụ niile, mee ka ha ghọgharịa nne nwata ahụ ndị mmụọ gburu rie. Nwata ahụ kelere dibịa mmụọahụ nnukwu ekele ya, na nne ya wee were ọsọ gbalagha. Mgbe ọkpụkpụnne ya ghọgharịrị mmadụ, a chọpụtara na nne ya na-arụzị ụkwụ akaekpe ya arụ. Ihe kpatra nke ahụ bụ na nwammụọ riri ya gbajiri ya ka o wee nwete ụmịọkpụkpụ ya mịchaa ya.

Ifo a kuziiri anyị na mmadụ inwe anyaukwu adịghị mma.
Ifo bụ ezigbo ọmụmaatụ abụsoifo, n'ihi na n'ime ifo, e nwere efotu ifo abụtụ abụ maọbụ kwetu ukwe.

**Ifo Naani/Akọmakọ Naanị**
Ụdị ifo a na-abụ naanị akụkọ, malite na mbido wee ruo na njedebe. A naghị ewebata abụ maọbụ ukwe ọbụla n'ime ya. Ọmụmaatụ: "Mbe na Ụmụ Atanị" (*Nza na Obu)* na "Ogwumagala na Ngwere" dị na *Nwaada Lọọlọ*.

**Ogwumagala na Ngwere**
Ogwumagala na ngwere adịghị na mma na mbụ. Ngwere na-achị Ogwumagala ọchị oge ọbụla ọ hụrụ ya, na-akpọkwa ya aha dị icheiche. Ogwumagala bụ onye ihere. Ihe a Ngwere na-eme ya na-ewute ya n'ihi na ọ dịghị ka ya. Nke a mere ka o buru ngwongwo ya gbapụ gaa n'ebe ọzọ biri. Ọ dịghị anya, owu wee na-erigbu ya. O nweghị enyi ma ya fọdụ ikwu na ibe. Nke a mere na ọ laghachiri n'ebe ya na Ngwere bi na mbụ mana ọ dịkwaghị onye na-atụpụrụ ya ọnụ. Ọ gakwuru Egbe, onye kwere nkwa inyere ya aka. Egbe kpọọro Ogwumagala ga n'ọhịa wee kpanye ya ahịhịa nke ọ tara na-eme ya ka onye ọbụla hapụ ịhụ ya ma ọ na-agagharị. Ahịhịa ọ tara nyekwara ya ike iji na-atagbu onye iro ya bụ Ngwere. Mgbe ọ lọtara, o gburu ọtụtụ Ngwere. Ụmụngwere amakwaghị ihe ha ga-eme. Nke a mere ka Ngwere hapụrụ Ogwumagala ebe ahụ ha niile bi were gbaga n'ahụ ụlọ biri.

Nke a bụ ihe mere Ngwere ji ebi n'ahụ aja bụrụkwa ihe mere Ogwumagala ji agbanwe agbanwe.

Ifo a a kpọrọ "Ogwumagala na Ngwere", gosipụtara ọmụmaatụ ifo bu akọmakọ naanị; n'ihi malite na mbido ya wee ruo na njedebe ya bu naanị akụkọ naanị, enweghị abụ maọbụ agụ ekwe n'ime ya ma ncha.

**NNWALE ONWE 4**
1. Ifo na-enwe abụ na-akọmakọ n'ime ya ka a na-akpọ
2. Akụkọ Mbe na Ejula dị n'*Omalinze* bụ ọmụmaatụ
3. Kedu ụdị ifo na-aka amasị ụmụaka?

## 3.3 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụ n'Agwa Dị n'Ifo

E nwekwara ikewa ifo na ị gbado ụkwụ n'ụdị agwa ndị dị n'ifo ahụ. Ụmụmmadụ, ụmụmmụọ, ụmụanụmanụ, osisi na ụmụ ihe ndi ọzọ na-enweghịndu, nwere ike ịbụ agwa n'ifo n'ihi na ha na- ha na-enwe akparamagwa mmadụ. Ha na-enwe ezinaụlọ dịka nke mmadụ, na-enwekwa ndị odogwu na ndị ofeke. Ha na-enwe ike gaa ahịa, gaa ugbo, mee ọgbakọ, mụọ ụmụ nwụkwa ma mekwa mmemme akwamozu. Ọbụ nke a kpatara na-abịa n'ifo, a naghịenwe ndịiche n'etiti *ụwa*atọndịa nke bụ ụwa mmadụ, ụwa mmụọ, na ụwa ụmụanụmanụ. Ihe ọbụla nwere ike ibụ agwa nke e ji akọwapụta emereme dị n'ifo. Ọ bụrụ na-agbaso usoro a, a ga-enweta ụdị ifo ndị a: Ifo ndi gbasara ụmụanụmanụ; Ifo ndi gbasara ụmụmmadụ; Ifo ndi gbasara ụmụanụmanụ na ụmụmmadu; Ifo ndi gbasara ụmụmmadụ na ụmụmmụọ; Ifo ndi gbasara ụmụanụmanụ na ụmụmmụọ; Ifo ndi gbasara ụmụanụmanụ, ụmụmmadụ na ụmụmmụọ. A naghị enwekebe ifo ndị gbasara naanị ụmụmmụọ n'ifo ha na-enwe ngwakọrịta na-ebe agwa mmadụ maọbụ agwa ụmụanụmanụ dị.

A ga-elebanye anya n'ihe gbasara agwa n'uju na moduul 4, yunit 3.

**NNWALE ONWE 5**

1. Ma e wepụ agwa ndị arụtụrụla aka n'elu, kedụ agwa ndị ọzọ a na-ahuta n'ifo Igbo?
2. Were omụmaatu gosipụta ebe e nwere ngwakọrịta agwa mmadụ, agwa mmụọ na agwa ụmụanụmanụ n'ifo Igbo.

## 3.5 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụ n'Ọrụ Ifo

E nwekwara ike ime nkenuụdị ifo site n'ụdị ọrụ ọ na-arụ. Ọ bụrụ na-eme nke a aga-enweta ụdị ifo ndị a. Ifo nwere ike bụrụ maka:

i. **Inye obi aṅụrị na ịkpa ndị mmadụ ọchị.**
Otu n'ime ihe ndi ebun'uche were efo ifo bụ iji mee ndị ogentị tụmadị ụmụaka a na-eforo ifo obiụtọ. Ifo na-atọ ụtọ na-eweta obi aṅụrị. Mgbe ụmụaka rụsịrị ọrụ dịrị ha n'ụbọchị, ha na-agbakọ maka akụkọ ifo n'ihi na akụkọ ifo bụkwa otu ụzọ ha si ezuike ma na-ekporikwa ndụ. N'ihi nke a akụkọa ga-akọrọ ha ga-abụ nke ga-enyeha obi aṅụrị/obiụtọ. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* "Nwakatimkpọrọ".

ii. **Ito Akpamike Nwoke/Mmadụ/Odogwu:**
Ndị Igbo bụ ndị na-akpa ike bụrụkwa ndị anaghị atụ ụjọ. Nke a mere n'ụfọdụ ifo ha na-abụkarị maka iji gosị akpamike mmadụ kpara na uru o ritere n'ikpeazụ. Ọtụtụ ifo dị etu a na-adabakarị

n'akụkọ iduu kpoo. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* "Enendụ Igboanugo, Nwa ka Nna Ya" na "Erem Ọka Mgba" n' *Ọka Mgba*.

iii. **Inye Chukwu Nsọpụrụ:**
Ndị Igbo kwenyere na Chukwu dị, na ọ bụ ya bụ Chi kachasị chi niile. Ha kwenyere na Chukwu bụ ya nwe ike niile na-enyekwa ngọzị di icheiche. Nkwenye a na-aputa ihe n'ụdị aha ha na-agụ ụmụ ha dịka: Chukwuebuka, Chukwukadibịa, Chibueze, Onyekachukwu, Chimdiebube, Tochukwu, Chinasaokwu. O bu n'ihi nke a ka ha ji wee na-efe ya ofufe ma na-asọpụrụkwara ya. Nkwenye na Chukwu dị site n'inye ya nsọpụrụ na-agba elu n'ọtụtụ ifo Igbo dị icheiche. Ọmụmaatụ *Mbediọgụ* "Mbe na Chukwu", *Ọmalịnze* "Ewu Chukwu" na ifo ndị ọzọgasị.

iv. **Nkụzi:**
Ifo bụ ụzọ esi akuziri ụmụaka ihe dị icheiche dịka eziomume, inwe akọnuche, amamihe, irube isi, na-enwe anyaukwu adịghị mma, dgz. Dika Nwadike (2001: xv) siri kwue, "Ndi a bụ akụkọ ndị a na-esite na ha mụta omume ọma maọbụ mụrụ akọ. Ihe a na-akọ n'akụkọ ndị a na-abụkarị ihe gbasara imere mmadụ ezigbo omume, ohi, ekworo, anya ukwu, aghụghọ, iji ihe ọjọọ kwụọ ụgwọ ihe ọma, mkpọrọmaasị, anyaụfụ na mmegbu". Ụdị akụkọ ifo ndi a bụ iji kuzie ihe; n'ụgwọọrọ dịịrị ihe ọbụla mmadụ mere dịka ihe onye ahụ mere si wee dị. Onye mere ihe ọma; ga-anata ụgwọọrụ dị mma, ebe onye mere ihe ọjọọ ga-anata ụgwọọrụ ọjọọ. Nke onye metara, o were isi ya buru.

Oge ụfọdụ, ihe nkuzi dị n'ụdị akụkọ a nwereike gbaa elu n'isi njedebe akụkọ ahụ. O nwereike pụta n'ụdị ndị a: ihe akụkọ na-akuzi bụ n'izu ohi, ịsị asị, igbu mmadụ, inupu isi, mmegbu maọbụ anyaukwu adịghị mma. Ọmụmaatụ:"Mbe na Ụmụnnụnụ"nke dị na *Nwaada Lọọlọ*.

**Mbe na Ụmụnnụnụ**
O ruru otu mgbe oke agụụ dara n'ala ụmụanụmanụ. Ụmụanụmanụ enweghị onye nwere ike iri nri otu ugboro ka ọ fọdụkwa ugboro abụọ n'ụbọchị. Oke ọkọchị dakwara n'ala ụmụanụmanụ oge ahụ. Nke a mere ka nri niile ha kọrọ n'ubi ha n'afọ ahụ nwụsịsịa.

Mbe wee kpọọ ụmụnnụnụ, gwa ha na ọ ka mma ka ha gaa n'eluigwe ga hụ Chineke. Ha hụ ya, ha akọọrọ ya ahụhụ ha na-ata n'ụwa, rịọkwa ya ka o nye ha ihe oriri. Ọ rịọkwara ụmụnnụnụ ka ha buru ya n'azụ ha wee feruo n'eluigwe. Ụmụnnụnụ wee kweta ihe Mbe gwara ha. Ha wee kwọrọ ya n'azụ wee feruo n'eluigwe. Mgbe ha rutere n'eluigwe, Mbe kpọrọ ụmụnnụnụ wee sị ha na

aha ya abụghịzi Mbe na aha ya bụzi "Ụnụniile". Ụmụnnụnụ kwetara nke a n'ihi na ha amaghị ihe Mbe bu n'uche.

Mgbe ha pụtara n'ihu Chineke, ha kọọrọ ya ihe ha ji maka ya bịa: na ụmụanụmanụ niile anwụchaala n'agụụ. Chineke meere ha ebere nke ukwu ma kwe ha nkwa na ọkọchị ahụ ga-abịa na njedebe, na ihe dum ha tinyere n'ala n'ubi ha ga-eme nnukwu nri. Ka ha kwadoro ka ha lawa, Chineke kpọrọ ụmụ ya gwa ha ka ha bukọta nnukwu ihe oriri na ihe ọṅụṅụ nye ha ụmụnnụnụ nke ha ga-ebu laa n'ala ha ga rie, ha na ụmụanụmanụ ndị ọzọ. Oge Chineke nyechara ha ihe ndị a, Mbe gwakwara ụmụnnụnụ so ya n'ije ahụ na ọ ka mma ka ha jụọ Chineke onye o nyere ihe oriri ndị ahụ. Ha ekwere. Mbe wee jụọ Chineke ka ọ gwa ha onye o nyere ihe oriri na ihe ọṅụṅụ ndị ahụ. Chukwu wee za ha na ọ bụ: "Ụnụ niile" ka o nyere ihe ndị ahụ. Nke a pụtara na ọ bụ ha niile bịara ka o nyere. Mana Mbe gwara ụmụnnụnụ na ọ bụ naanị ya ka Chukwu nyere ihe oriri ndị ahụ n'ihi na aha ya bụ "Ụnụniile" dịka o siri gwa ha na mbụ.

Ka ha kwadoro ụla, Mbe chọkwara nnukwu akpa wee fọjuo ihe oriri na ihe ọṅụṅụndị ahụ. O nyeghi ụmụnnụnụ buya gaa ma otu. Nke a mere ka iwe wee ụmụnnụnụ nke ukwu. Ha wee bupụta Mbe, hapụ ya n'etiti ikuku fesasịa lọtawa n'ụwa. Mbe wee si n'elu, ya na akpa nri ya adaa n'ala. Ahụ ya niile wee kụrịchaa mkpirisi n'ihi na o nweghi nku nke ọna-efe efe. Ọ bụ ya mere okpokoro azụ Mbe ji enwe nkawasị wee ruo taa.

Ihe ozizi ifo a bụ na mmadụ inwe anyaukwu adịghị mma.
N'aka nke ọzọ, ihe nkuzi dị n'akụkọ ahụ nwere ike ọ gaghị apụta ihe na njedebe akụkọ; kama a na-esite n'ihe mere n'akụkụ ahụ mụta ihe a tụrụ anya n'ime ya.

Ọtụtụ ifo Igbo na-ewepụta otu onye nwere ọgụgụisi si agafere ọnya e kweere ya. Nke a bụ iji gosị ụmụaka uru ọ bara inwe akọnuche, ka ha ghara ito bụrụ ndị nzuzu. Ọmụmaatụ; *Ọka Mba* "Ụsụ Nzuzu na Ụsụ Akọ".

**v. Igosị Omenala na Okwukwe Ndị Igbo.**

ifo yiri ugegbe e ji ahụ ndụ ndị nwe ya. Mba ọbụla nwere ihe dị icheiche e jiri mara ha, nke mere ha jiri dị iche na mba ndị ọzọ. Ụfọdụ n'ihe ndị ahụ ha jiri dị iche gụnyere asụsụ, ekike, nri, omenala, ọrụ, nkwenye, ekpemekpe, dgz.

- **Nri Ndị Igbo**

  N'ifo Igbo, anyị na-ahụ ụdịrị nri ha na-eri dịka ji, ede, akpụ, ọka, akịdị, ụtara, azụ, ọkwụrụ, nnu, anụ ọkụkọ dgz. Ọmụmaatụ: *Ọmanlịze* "Ede nwa na-nweghị nne" Akụkọ a

na-akọ maka otu nwoke lụtara nwaanyị abụọ. Nke isi nwaanyị nwere ikpo ede ebe nke ọzọ e nweghị. Mgbe isi nwaanyị ahụ nwụru, nwaanyị nke ọzọ sibezie ede ahụ, ya na ụmụ ya. Ede a kpọrọ aha n'ifo abụ iji gosi na ede so n'otu n'ime nri ndi Igbo nwere. N'*Akụkọ Ifo Ụfọdụ Ka Umu MMadu Mara*, akụkọ "Oke Ọhịa na Oke Ụlọ" na-akọ maka ebe oke ọhịa bịara be oke ụlọ, nwunye oke ụlọ butere ya nri nke anụ na azụ jupụtara n'ime ya. Omume dị otu a na-apụta ihe na ndụ ndị Igbo. Ọ bụrụ na mmadụ bịa be onye ọzọ, onye ahụ na-ebunye ya nri dị ọgọ n'anya, ya bụ nri jupụtara na anụ na azụ. Anu na azu sokwa na nri ndi Igbo. N'akụkọ "Mbe na Anụka Mbeakọ" nke dikwa n'*Akụkọ Ifo Ụfọdụ Ka Umu Mmadu Mara*, nwunye Mbe siiri ewi ofe ọkwụrụ nke o tinyere azụ n'ime ya. N'otu aka ahukwa, n'akụkọ "Agadi Nwaanyị Mmụọ na Ụmụnne Abụọ" nke dị n'*Ọka Mgba* kọwara otu nne ụmụaka siri wee nye ụmụ ya ji na eju ka ha hụọ n'ọkụ rie ma agụụ gụba ha. Gbaa mbo choputakwuo ifo ndi wepụtara nri ndi Igbo.

- **Ekike Ndị Igbo**

  Ndị Igbo na-eyi ihe dị icheiche n'ahụ dịka ọgọdọ, ọlaọcha, ọlaedo, jigida, ọla ntị/iyori ntị, uri, ihe olu, ọdụ aka (ivory/elephant tusk) dgz. Ụfọdụ ifo ndi Igbo na-egosipụtakwa ekike ndị Igbo. Ọmụmaatụ: N'*Ọmalịnze*, akụkọ "Ụmụagbọghọ Jere Egwu n'Eke Oloma" gosịpụtara ihe ekike ndị Ogbo.Ụmụagbọghị ji ihe ekike ndi a: ọdụ ụkwụ, iyori nti, ọdụ aka, jigida, (bead), ọlaọcha na ọlaedo, dgz. were jikee onwe ha mgbe ha na-eje egwu. Akụkọ "Mbe na ezi" di na *Mbediọgụ*gosipụtara ebe Mbe zụtaara nwunye ya akwa. Dịka anyị siri mara, akwa bụ otu n'ime ihe ndị eji eke ekike. Na *Mbediọgụ*, "Mbe na Amụma" gosịpụtara ihe ndị Igbo ji eke ekike dịka akpa. N'ebe a, nwunye Mbe bunyere Amụma akpa ya ka o budoro ya. "Obizara" di na *Nza na Obu* gosịpụtara ihe ndị Igbo ji eke ekike dịka ọdụ ụkwụ, ọdụ aka, ihe olu, ndị e yibere Obizara n'ahụ.

- **Ọrụ Ndị Igbo na-Arụ**

  Ndi Igbo bụ ndị na-agba mbọ ma na-arusikwa ọrụ ike. E nwere ọrụ dị icheiche e ji mara ndị. Ha gunyere:

  i. **Ọrụubi**:

     A maara ndị Igbo dịka ndị na-arụ ọrụubi nke ukwuu. Ọmụmaatụ: na *Mbediọgụ* akụkọ "Mbekwu ndị Mmụọ kpuruisi na Agụ" kọwara maka ụdị ọrụ ndị Igbo na-arụ dịka ịkọ ji n'ubi. E gosịputara ebe Agụ, nwunye ya na nwa ya na-akọ ji n'ubi ha.

ii. **Ite Nkwụ**

Ite nkwuna-apụtakwa ihe n'ifo Igbo dịka otu n'ime omenaala ndị Igbo nwere. Ọmụmaatụ: N'*Ọmalịnze,* akụkọ "Ughelighiọma Dimgba" gosịkwara ndụ ndị Igbo dịka ndị e ji ite nkwụ mara. O gosịrị na ndị Igbo na-ete nkwụ ụfọdụ oge na-ahụ ndị mmụọ. Nke a mere ndị Igbo ji atụ ilu sị na "Diochi anaghị akọcha ihe ọ hụrụ n'elu nwụ". N'akụkọ a, e gosịrị nna Ugheḷighiọma dịka diochi (Palm wine tapper).

iii. **Ịchụ Nta**

Ịchụ nta na-apụtakwa ihe n'ifo Igbo. Ọmụmaatụ: N'*Ọmalịnze*akụkọ "Dinta na Nkịta Anọ Ya" kọwara etu ndị Igbo si achụ nta nakwa ihe ike ha na-ezute n'ọhịa nta, nke ụfọdụ n'ime ha nwere ike ịnwụ na ya.

- **Nkwenye na Mma, Mmụọ na Chukwu**

Ndị Igbo kwenyere na mma site n'etu ha si akọwa mma nwata nwaanyị. Ha kwenyekwara na mmụọ dị, na ndị nne na nna ha nwụrụ anwụ na-apụta agwa ha okwu. Ha kwenyekwara na Chukwu si, onye na-ahụzu ihe niile ma mazukwa ihe niile. Ọmụmaatụ nkwenye na Chukwu putara na "Mbe na Ọgbugba Amamihe" na *Mbediọgụ*.Akụkọ a gosịrị na ndị Igbo kwneyere na Chukwu mazu ihe niile. N'*Ọmalịnze*, akụkọ "Ọna Nwa Ọbịara Ine" kọwara Ine dịka nwaagbọghọ magburu onwe ya na mma. Eze ya na-enwu ka nzu, anya ya abụọ na-egbukesi ka nke ugo, ahụ ya dum na-akwọ mụrụmụrụ, aji dị n'ahụ ya na agịrị isi ya dị yọrịị ka ajị oke.

Akuko ifo Igbo sokwa n'otuụzọ e si egosipụta omenala ndị Igbo.Ọtụtụ omenala ndị Igbo na-apụta ihe n'ifo Igbo. E nwere ịlụ nwaanyị, ịkwa ozu, ịgba mgba, ịgọ ndụ, ịgọ ọjị, iri ji ọhụrụ, ịchụnta, ịgba egwu, ite nkwụ, dgz. n'ifo Igbo.

**Omenala Ndị Igbo n'Ifo Igbo**

- **Ịlụ Nwaanyị**

E gosịpụtara omenala ndị Igbo bụ ịlụ nwaanyị n'akụkọ "Mbe na Ejula" nke dị na*Mbediọgụ.* Nke a na-akọwa ebe Mbe na Ejula gara ọrụ be eze ka ha wee lụọ Adaeze. Eji Mbe na Ejula wee gosịpụta na mgbe mbụ, mmadụ na-aga ọrụ na be onye ọ chọrọ ịlụ nwa ya nwaanyị. Na *Mbediọgụ*n'akụkọ "Mbe na Otu Oka" e gosịpụtara ebe Mbe ji otu mkpụrụ ọka gaa lụta nwaanyị.N' *Ọka Mgba* "Ada Agụ na Ada Nwa Ogbenye" gosịpụtara Idu nwaanyị ụlọ. Akụkọ agosipụtara etu e si edu nwaanyị a lụtara di ụlọ ma bunyekwa ya ihe ya na di ya ga-eji bi ezinaụlọ, ma

kpọnyekwa ya ohu ga na-ejere ya ozi. Ọmụmaatụ ọzọ bụ n'*Ọmalịnze*, "Anụ Tụrụ Agwa ga-Alụ Ọnalụ". Akụkọ a na-akọwa etu ndị Igbo si alụ nwaanyị maọbụ etu nwaanyị si alụ di. Ndi Igbo bụ ndị na-agbakwasị ụkwụ n'agwa mmadụ, oge ha na-ekwu okwu nwaanyị maọbụ di. Ihe dịka na mmadụ nwere ike iji maka ihe mmadụ meere ya mgbe ọ dị ime nwata nwaanyị o bu n'afọ wee chọọ ka onye ahụ lụọ nwa ya ahụ ma o too.

- **Ili Ozu/Ịkwa Ozu**
  A na-ewepụtakwa omenala ndị Igbo dịka ịkwa ozu n'ifo Igbo. Ọmụmaatụ: *Ọka Mgba,* n'akụkọ "Mbe na Abụzụ". Akụkọ a gosịpụtara etu o si abụ mmadụ nwụọ, n'ala Igbo ndị ọgọ ya na ndị enyi ya eburu egwu gaa mgbe a na-akwa onye ahụ. Nke a pụtara ihe n'ebe Mbe ji egwu gaa maka ịkwa ọgọ ya nwoke.
- **Ịgba Mgba**
  Ịgba mgba na-apụtakwa ihe n'ifo Igbo, iji wee gosịpụta omenaala ndị Igbo.Ọmụmaatụ: "Mbekwu na Nkịta Jere Mgba" na *Mbediọgụ*. Akụkọ a gosịrị etu ndị Igbo si agba mgba dịka i si na be ha gaa mgba n'ala ndị ọzọ, iji nweta ihe n'ala ahụ. Ọmụmaatụ ọzọ bụ "Erem, Ọka Mgba" n'*Ọka Mgba*. Akụkọ a gosịrị ndị Igbo dịka ndị siri ike, ọkachasị n'ebe ịgba mgba dị. Nke a pụtara ihe n'etu Erem siri gbaa mgba n'ebe niile ma lọtakwa n'udo.
- **Ọjị /Ịgọ Ọfọ**
  Ịgọ ọfọ maọbụ ọjị na-apụtakwa ihe n'ifo Igbo. Ọmụmaatụ: "Ọjị Bụ Isi Omume" na *Nza na Obu*. Akụkọ a kọwara etu ndịkom isii siri kwuo okwu ma mee Nze ka ọ gaba ije mgbe Nze, onye ngwọrọ, cheere ha ọjị. Na *Mbediọgụ*, "Nkịta na Ọtụ Arokọwara ebe Mbe gosịpụtara omenala ndị Igbo dịka ichere mmadụ ọjị maọbụ ịkpọku ndị nna nna anyị ha mgbe a na-awa ọjị. Nke a pụtara ihe mgbe Mbe batara na be ya, wee hụ ihe Nkịta kpụrụdobe na be ya. O wee chee na ọ bụ nna nna ya ochie na-awa ya n'afa ka mgbe, wee bute akpa ọjị ya, cheere ya ọjị osisi sị: 'Nna a, nna a taa ọjị'. n'otu aka ahụkwa, na *Mbediọgụ*, "Mbe, Nkịta na Utukuru" gosputara ebe Mbe jere n'ọkpụlọ nna ya ịghọrọ ọjị ọ ga-eji gbacha ọfọ ya. Na *Mbediọgu k*wa, n'akụkọ "Mbe na Ejula", e gosipụtara ndịIgbo dịka ndị na-echere mmadụ ọjị ụtụtu ma mmadụ bịa be ha. Nke a pụtara ihe mgbe Mbe jere na be Ejula, Ejula cheere ya ọjị. Mbe wee waa ọjị sị "Ọfọ nna m taa ọjị, anụ pụrụ ije, ya nwee nlọta". Nke a gosịrị ndụ ndị Igbo dịka ndị kwenyere na mgbe mmadụ na-apụ njem, ọ na-ago ọfọ, kpọkuo ndị nna nna ya ha ka ha nyere ya aka, ka o jee njem ya ma lọta n'udo. Ọ ga-akpọkukwa Chineke macha ihe niile ka o

dubekwa ya. Mbe gọchara ọjị a tupu ya na Ejula a pụọ njem ha.

- **Afa/Aja (Divination)**
  Afa maọbụ Aja na-apụtakwa ihe n’ifo Igbo. Ọmụmaatụ: Na *Mbediọgụ*, akụkọ “Mbe na Ejula” gosipụtara ndị Igbo dịka ndị na-aga n’afa oge ha chọrọ ịchọpụta ihe na-eme ha maọbụ ihe ha ga-eme mgbe nsogbu dakwasịrị ha. Nke a pụtara ihe mgbe Mbe tigburu nwaanyị ahụ. Ọ gara n’afa ịmata ihe ọ ga-eme. Ejula gakwara n’afa, ọgba afa gwa ya ihe ọ ga-eme.
- **Ọtụ Aro/Ọkpa Ịta**
  Nke a na-apụtakwa ihe n’ifo Igbo. Ọmụmaatụ, na*Mbediọgụ,* akụkọ “Mbe na Ududo” gosịrị na ndị Igbo na-ejekwa na nke ọtụ arọ ka ọ gwa ha ihe ha ga-eme mgbe ha nọ na nsogbu maọbụ mgbe ha chọro inweta ihe. Nke a pụtara ihe mgbe Ududo gara be ọtụ aro ka ọ gwa ya ihe ọ ga-eme Mbe. Ọzọ kwa, bụ n’*Ọmalịnze,* n’akụkọ “Atụụta m Nwa Iliko”. Ndị Igbo na-ejekwa na nke ọkpụ ịta ma ha nwee ihe mgbagowujuanya. Nke a pụtara ihe mgbe Mbe jere be ọkpa ịta ka ọ gwa ya ka ọ ga-esi lụta ụmụnwaanyị atoahụ.
- **Dibịa**
  Nke a na-apụtakwa ihe n’ifo Igbo. Nke a bụ omenala ndị Igbo dịka ị ga be dibịa mata ihe na-eme na ndụ ha/ezinaụlọ ha. Dibia nwere ike bụrụ nke ji mkpọrọgwụ na m̀kpa akwụkwọ were n’agwọ ọrịa. Ọmụmaatụ: “Mbe A Gana Esu” *(Ọmalịnze* ih.akw. 108). Akụkọ a kọwara ndị Igbo dịka ndị na-agakwa na nke dibịa. Nke a pụtara ihe ebe nwa agadi nwaanyị Mbe na-ezuru nri ya gara na nke dibịa, ka ọ mara ihe na-eme nri ya. Ọzọ bụ n’*Ọka Mgba* (ih.akw. 107) akụkọ “Erem, Ọka Mgba”. Akụkọ a gosịrị etu dibịa, a kpọrọ “Onye oje na mmụọ” siri nye Erem akwa ọkụkọ ọ ga-eji mee ka ụzọ e si eje ala mmụọ pụta.

## 3.6 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụ n’Ebe Emereme Ifo

Ụzọ ọzọ e nwekwara ike isi wee kewaa ifo Igbo bụ site n’ ịgbado ụkwụ n’ebe emereme ya na n’isiokwu ndị mejupụtara ifo ndị ahụ. E lebara ne a anya n’uju na Moduul 1, Yunnit 5.

## 3.7 Nkenụdị Gbadoro Ụkwụn’Isiokwu

Ụzọ ọzọ e nwekwara ike isi wee kewaa ifo Igbo bụ site n’ ịgbado ụkwụ n’isiokwu ndị mejupụtara ifo ndị ahụ. E lebara anya n’isiokwu ifo na Modul 2, yunit 1. Gbaa mbọ gugharịa ya nkeọma ọzọ.

**NNWALE ONWE 6**

1. Site n'ihe ị mụtara n'ebe a, depụta ma kọwaa ọrụ dị iche iche ifo na-arụ.
2. Kọwaa omenala Igbo ndị na-ese elu n'ifo Igbo.

## 4.0 MMECHI

N'iheọmụmụ yunit a, e lebara anya n'ụzọ di icheiche e nwere ike isi wee kewaa akụkọ ifo Igbo. E mere ka a ghọta n'ụzọ nke ọbụla n'ime ha dicha mkpa n'akụkụ nke ya.

## 5.0 NCHIKỌTA

Ime nkewa akụkọ ifo Igbo bụ ihe e nwere ike ime n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụzị ọrụ dịịrị onyenkuzi ịkọwapụtara ụmụakwụkwọ ụzọ ndị ahụ dịka o si metụta ihe ọmụmụ ha. Gbazie mbọ n'onwe gị chọpụta ma o nwekwara ụzọ ndị ọzọ a ka nwereike isi kewaa akụkọ ifo nke a na-arụtụghị aka n'ihe ọmụmụ a.

## 6.0 IHE OMUME

1. Ifo ndị Igbo bụ ugegbe e ji ahụta omenala na nkwenye ndị Igbo. Tulee nke a site n'akwụkwọ akụkọ ifo ndi i jiri wee mụọ ihe.
2. Were ọmụmaatụ doro anya gosipụta ka ifo si bụrụ otu ụzọ esi egosipụta nkwenye ndị Igbo na Chukwu
3. Ndị Igbo bụ ndị eji ịrụsị ọrụ ike na ọrụ ugbo wee mara. Kedụ ka nke a si agba elu n'akụkọ ifo ndị Igbo?

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara.* Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C .B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

# YUNIT 4 ỤWA AKỤKỌ IFO.

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Ụwa akụkọ ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngumi

## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ dị n'akụkọ ifo ndi Igbo bụ akukọ na-emeghị eme; ọ bụ akụkọ ụwa nrọ mana ọ bara oke uru na ndụ nḍi Igbo. N'ihi na ha ji ya azụlite ụmụaka ibi ezi ndụ, dịka e kwurula. E ji agwa ndị dị n'akụkọ ifo Igbo egosipụta ihe ndị na-emegasị n'ụwa nke mmadụ, n'usoro ebimndụ ndị Igbo. Na yuniit a, a ga-elenye anya n' ihe ndị a na-ahụta n'ụwa akụkọ ifo.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit iheọmụmụ a, i ga-enweike:

- kọwapụta ihe ụwa akụkọ ifo pụtara n'uju
- kwuo ka ụwa akụkọ ifo si dị iche n'ụwa mmadụ bi n'ime ya
- kowaa ka ụwa akụkọ ifo si wee nwee mmetụta n'ebe ụwa nrọ dị.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Ụwa Akụkọ Ifo

Dịka ndị mba Afrịka ndị ọzo, ndi Igbo nwere agụmagụ zuruoke nke ha, nke ha na-ahafe n'aka ụmụ na ụmụ ụmụ site n'okwu ọnụ. Otu n'ime agụmagụ ndi Igbo a bụ akụkọ ifo. Akụkọ ifo bụakụkọ na-emeghị eme. Ọ bụ akụkọ ndi mmadụ chepụtara n'isi ha. A maghị oge akụkọ ndị a malitere maọbụ ndị chepụtara ha. Ọ bụ akụko zuru akụkụ Igbo niile ọnụ. Onweghi akụkụ Igbo a ga-asị na ọbụ ha nwe ya kpọmkwem. Dika Uba-Mgbemena (1985), si wee kọwaa; na n'oge gara aga na ndị nne nanna na ndị okenye na-akpọkọta ụmụaka n'oge ha rụchara ọru ụbọchị, oge ezumike; na mbara ezi ha, oge ọnwa na-eti iji wee kọọrọ ha akụkọ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na n'oge agụmagụ na edemede bịara na ndị nkuzi na-akpọkọtakwa ụmụaka n'okpuru osisi iji kọọrọ ha akụkọ ifo.

Mana ụfọdu na-eche na n'ihi n'akụkọ ndị a bụ akụko ụwa nrọ na enweghi uru ha bara karịa iji wee nọrịa oge. Abịa n'akụkọ ifo Igbo, ihe ọbụla pụrụ ime n'abụghi ka o si eme n'ụwa mmadụ bi n'ime ya. Akụkọ na-adị n'akụkọ ifo Igbo bụ akụkọ ụwa nrọ; ha abụghị ihe ndi mere eme kpọmkwem. N'agbanyeghị nke a, akụkọ ifo ndi a bara oke uru na ndụ ndị Igbo. E ji ha akuziri ụmụaka ịmata ihe dị mma na nke di njo. Ha na-enyeaka n'iwulite ụbụrụ na nghọta ụmụaka. NdịIgbo na-agbado ụkwụn'akụkọ ifo ndị a wee na-akuziri ụmụ ha ihe dị iche iche, dịka ịsọpụrụ ndịokenye na isọpụrụ nsọala, irube isi, ikwu eziokwu, ịhụ mmadụ ibe ha n'anya, inwe ezi mmekọrịta n'ebe ha na mmadụ ibe ha nọ.E sikwa naya a kuziri umuaka agwa ndị ha kwesiri izere tinyekwara ịmụta ezigbo agwa ndị ọzọ a tụrụanya na ụmụaka ga na-akpa. Uba-Mgbemena kwuru na tupu ndị ọcha abia, wee ghasasịa ihe niile, n'akụkọ ifo so n'otu ụzọ pụrụ iche ndi Igbo si azulite ụmụaka.

Akụkọ ifo ndị Igbo dịka enyo eji ahụta ndụ ndị Igbo, dịka a rụtụrula aka. A na-esite n'akụkọ ifo Igbo e gosipụta usoro ebimndụ ndị Igbo, omenala, nkwenye, ekpemekpe na ahụmihe ụwa ha.

Ọmụmaatụ: Akụkọ "Ada Agụna Ada NwaOgbenye" nke dị n'*ỌkaMgba.*

**"Ada Agụna Ada NwaOgbenye"**

Otu mgbe Agụ mụtara otu nwa nwaanyị mara mma nke ukwu. Ada ya a na-anya isi n'ihi ụba nna ya bara. Ihe ọbụla ọ chọrọ, nna ya na-emere ya. N'ala ahụ kwa, otu ogbenye dị. O nwere ada mara mma. Ma o nweghị ike inye ada ya ihe niile ọ chọrọ, n'ihi na o nweghị ego na akụ dika Agụ nwere. Nke o nwere ehighi nne.

Otu ụbọchị, ụmụ agbọghọ a ejekọtaa, bụrụ enyi. Enyi ha siri nnọọ ike, bụrụ a gawa a ghaghị. Mgbe ụfọdụ, Ada Agụ na-eleda enyi ya anya, na-eluru ya ọnụ ụba nna ya bara. Ada Nwa Ogbenye anaghị atụbara ya ọnụ. Kama ọ gbara ya nkịtị.

Mgbe ụmụ agbọghọ abụọ a tolitere, di abịara ha. Ada Agụ alụọ di, Ada Nwa Ogbenye alụọkwa di nke ya. Ma ha alabeghi na di. Otu ụbọchị, ụmụ agbọghọ abụọ a zukọtara na-akpa otu ha si ala na di. Ada Agụ asị. "Di na-alụ m nwere ọtụtụ ego, baakwa eze. N'ihi ya, nna m ga-eji otu ọba ji na otu ọba ede na otu ohu edu m ụlọ".

Ọ jụrụ Ada Nwa Ogbenye ihe nna ya ji edu ya ụlọ. Ada Nwa Ogbenye asị na ya amaghị, were ihu mgbarụ laa n'ụlọ ha. Ada Agụ weere ihu ọcha na ihu ọchị laakwa n'ụlọ nke ha.

Mgbe Ada Nwa Ogbonye laruru ụlọ, o bewere nne ya na nna ya akwa, rịọ ha ka ha jiri otu ọba ji na otu ọba ede na otu ohu duo ya ụlọ ụbọchị ya ga-ala na di. Ọ sịkwa ha ka ha jiri ewu na ọkụkọ dulaa ya. Ha kwere

ya nkwa na ha ga-agbalịsi ike were ihe niile ọ rịọrọ ha duo ya ụlọ. Ha nwara ike ha, ree ihe niile ha nwere zụzuoro ya ihe niile ọ chọrọ, chere ụbọchị ọ ga-ala na di.

Ada Agụ lakwara gaa gwa nne ya na nna ya ihe ọ chọrọ o ji ala na di. Ha gbara ya nkịtị, kpara ihe ọzọ. Ha were iwe sị na ọ dịghị mgbe ọ bụla ọ na-ekwe ka ha zuru ike. Ma ọ chọghị nke a, ya achọọ nke a. Ọ dịghi ihe ọbụla ha zụụrụ ya.

Izu ụmụ agbọghọ abụọ ahụ ga-ala na di eruo. Ada Nwa Ogbenye ewerechaa ihe niile nne ya nna ya zụụrụ ya pụta n'ama, kpọwa Ada Agụ oku, sị,
Ada Agụ!
A gba e fe miri.
Ada Agụ!
A gba e fe miri.
Mụ na ọba ji m,
A gba e fe miri.
Mụ na ọba ede m,
A gba e fe miri.
Mụ na ohu m,
A gba e fe miri.
Anyị laa ooo!
A gba e fe miri.
Anyị la ooo!
A gba e fe miri.

Ada Agụ apụtaghi ngwa ngwa. Ada Nwa Ogbenye aga n'ụlọ ya, hụ ya ebe ọ gba aka Ihere mere Ada Agụ nke ukwuu. Ya apụta, gbara aka laa na di.

Akụkọ ana-egosipụta usoro alụmdi nanwunye ndi Igbo nke gụnyere idu ụlọ. Site n'ụdị ifo a, ụmụaka ga-amụta na ndị Igbo nwere usoro pụrụ iche ha na-agbaso n'ịlụ nwaanyị. N'ihi na ọ na-aghị abụ nwata nwoke hụ nwaanyị n'ụzọ, ọ kpọrọ ya laa be ya, ọ bụrụzịa nwunye ya. O nwere ihe ndị ana-atụ anya na ndụ ndị Igbo mmadụ kwesiri ime tupu asị na ọ lụọla nwaanyị. Ụfọdụ n'ime ha ka e gosipụtara n'ifo nke a e lebara anya n'elu.

Ọzọkwa, a na-esite n'agwa ndị ahụ dị n'akụkọ ifo Igbo egosipụta ihe ndị a na-ahụ na ihe ndị na-eme na ndụ ndị Igbo. Ihe ndị a gụnyere: ụdị ọrụ ha n'arụ, ụdị nri ha na-eri, ụdị ekike ha, ekpemekpe ha nkwenye ha, ihe ndi ha na-asọ nsọ. Agwa ndi di n'akụkọ ifo Igbo nwegasịrị ihe ndi ha na-egosi na ndụ ndị Igbo. Omumaatu: "Ihe Kpatara Agụiyi Anaghị Anwụ N'Ime Mmiri" nke di n'*Éké Na Égwùrùgwù*

**“Ihe Kpatara Agụiyi Anaghị Anwụ n’Ime Mmiri”**
Agụiyi bụ eze ụmụ anụ niile bi na mmiri. N’ihi na ọ hụrụ onwe ya dịka anụ dị ike, nke ọzọ bụrụ na ya bụ eze ha, o werezie ụmụ azụ ka nri o ji azụ onwe ya. Ọ na-eme mkpọtụ dị egwu mgbe ọ na-achụ ụmụ azụ ndị ya na ha bi na mmiri.

Ọnọdụ a Agụiyi dotere ụmụ azụ na-agbawa ha obi, ha wee mee nzukọ, tụlee ka ha ga-esi mesie onye iro ha ike. Otu azụ a na-akpọ Ọkpọ kwuru ka azụ ndị ọzọ hapụrụ ya ihe ahụ ma na-akpọ ya ‘E lelịa nwa ite’.

N’ụbọchị ọzọ, Agụiyi bidokwara ịchụgharị ụmụ azụ. Ọkpọ agbaghị ọzọ ọbụla, kama ọbịara nọchie ụzọ ebe Agụiyi ahụ si agafe. Ọ kwụsịrị ike n’elu mmiri na-efe isi na ọdụ a gbawam gbawam ma wekpuo ntu ya n’ime ahụ ya. N’oge a ka Agụiyi bịara loo ya. Ma mgbe Ọkpọ ruru Agụiyi n’okpo, ọ mịsịtasịa ntu ya wee dụchie Agụiyi nkọlọ. Ugbua, nsị egu abụrụla ọnwụ ya. Egwu ọnwụ bidoro tụwa Agụiyi ma ọ chọghị ka ụmụ azụ jiri ozu ya gbaa Ekeresimesi. N’ihi na ọ chọghị ka ndị iro gbasa ozu ya asọ, o wee buru ajụ ọnwụ gwuru mmiri gwupụ n’elu ala, wee nọrọ ebe ahụ nwụọ.

Site n’ụbọchị ahụ, Agụiyi ekpebie n’ime onwe ya na ya agaghị anwa anwa anwụ n’ime mmiri, ya sọ elu ya gbawaa abụọ.

N’ụdị akụkọ ifo a dị n’elu, ebe obere anụmanụ na-emeri nnukwu anụmanụ site n’ọkpụkpụ aka maọbụ n’amamihe na-egosipụta nkwenye ndi Igbo na ‘e lelie nwaite ọ gbọnyụo ọkụ’. Agwa Okpo, obere anụmanụ n’imeri Aguiyi nnukwu anumanụ na-egosi na onye obụla nwereike ime ihe ọbụla na-agbanyeghị ihe ndị mmadụ na-eche maka onye ahụ. N’ihi nke a ọ dịghị mma ileda onye ọbụla anya na-agbanyeghịotu onye ahụ ha maọbụ otu ogudebere akwụkwọ maọbụkwanụ kpatadebe ego.

Ihe ọzọ na-agbakwa elu n’akụkọ ifo Igbo bụ oge akụkọ ahụ ji mee. Ihe a na-ahụkarị n’akụkọ ifo Igbo bụ- otu mgbe, oge gara aga, na otu ụbọchị dgz. E nwekwara ike ihu ihe dika ndi a- mgbe ụwa ka dị ọhụụ/ka gba ọtọ, mgbe ezi di n’ukwu ụkwa, mgbe ụwa di n’anya isi. A anghị agba mbọ iwepụta oge akụkọ ifo ka odi ̣otu esi agụ oge n’ụwa mmadụ. Ihe ndị a bụ iji gosi n’akụkọ ifo enweghị oge mmalite na oge njedebe.

## 4.0 MMECHI

Ụwa akụkọ ifo dịwaga iche n’ụwa nkịtị mmadụ bi n’ime ya; n’ihi ihe ọbụla pụrụ ime n’akụkọ ifo ma nke nwere ike ime n’ụwa mmadụ ma nke na –enweghi ike ime. Ihe ọbụla nwekwara ike ịbụ agwa n’akụkọ ifo ma ọ dịghị otu a n’ụwa mmadụ; ebe mmadụ ga-akpa agwa dịka mmadụ, mmụọ akpa agwadịka mmụọ, anụmanụ akpaa agwa dịka anụmanụ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Ma n'agbanyeghị ndịiche dị n'etiti ụwa mmadu na nke akụkọ ifo, eji emereme, nkata, okwu ọnụ, agwa na ihe niile na–agba elu n'akụkọ ifo egosipụta ihe na-eme na ndụ ndị Igbo; ma sikwa n'ụzọ dị otu a wee na-akụzi ihe dị icheiche. Akụkọ ifo Igbo, (ọkachasị nkenụdị akụkọ ifo anụmanụ bụ agwa ya) nọ dịka enyo eji ahụta ndị Igbo na ndụ ha.

## 6.0 IHE OMUME

1. Onye chọrọ ịmata ndụ ndi Igbo ga-ahụta ya n'akụkọ ifo ha. Tulee nke
2. E nwereike iji uwa akụkọ ifo ndị Igbo tụnyere ụwa mmadụ. Tụlee nke

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Anyachebelu, A. L. (2019). Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. A Ph.D Thesis, University of Lagos.

Achọlọnụ, C.O. (n.d.) "The Igbo Folktales as Imaginative Literature". In *Aṅụ (Ed.), A Magazine of Igbo Culture.* 1(3), 71 – 77.

Chukwukere, N. F. (1993). Igbo Folktales about Women: Features and Ideological

Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition*. Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. PhD Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Ikwubuzo, Iwu (2008). "Igbo Oral Literature and the Igbo Youths Today: What Literary Legacy for Posterity", in I. Ikwubuzo, C. Ohiri-Aniche & C. Nnabuihe (Eds.). *Udezuluigbo: A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu*. Lagos: Green Olive Publishers, 39-56.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara.* Lagos: Katz & FodorAcademy.

Mba, B. M. and Mba, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwaozuzu, G. I. (1985). 'Child Image in Igbo Folktales'. M. A. Project Report, Linguistics, University of Nigeria, Nsukka.

Nwaozuzu, G. I. (2006). The Child as the Image of Innocence and Credulity, *Journal of Igbo Studies Association.*

Nwaozuzu, G. I. (2007). 'The Traditional Woman- A Villain or a Victim? A Study of the Image of Women in Igbo Folktales'. *Journal of Igbo Studies*. 2, 27-33.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Nigeria: Africana First.

Thompson, S. (ed.) (1977). *The Folktale*. Berkeley: University of California Press Ltd.

Toni-Duruaku, O. (2004). 'Folktale and Contemporary Igbo Families'. *Journal of Nigerian Languages and Culture*, 6(2). 98-102.

Tshiwala-Amadi, R. (1980). 'The African folktale'. *Nigeria Magazine.*Lagos: Bronze Gallary and Co. Ltd. 89-95.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# YUNIT 5 EBE EMEREME IFO IGBO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Kedụ ebe akụkọ ifo na-emegasị?
3.1.1 Ala ụmụmmadụ
3.1.2 Ala ụmụanụamanụ
3.1.3 Ala ụmụmmụọ
3.1.4 Ngwakọrịta n'ebe emereme
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit nke ise a, anyị ga-elebanye anya n'ebe di icheiche ihe ndị na-eme n'ifo na-agbado ụkwụ wee na-eme. E kwubuola na akụkọ ndị dị n'ifo bụ akụkọ arọmarọ, nke na-emeghị eme. Ọ bụ ihe ọkọọ rọpụtara n'isi ya. N'ihi nke a, ọtụtụ ihe ndị a na-ahụ na-eme n'akụkọ ifo abụghị otu ha si eme n'ụwa mmadụ nọ n'ime ya. N'akụkọ ifo, ihe ọbụla pụrụ ime. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ala emererme ifo ji wee dịkwa iche n'ala mmadụ; na-agbanyeghị n'ụfọdụ ihe na-eme n'ifo nwereike bụrụ n'ala mmadụ ka a ha na-agbakwasị ụkwụ wee na-ame.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha iheọmụmụ yuniit a, ị ga-enweike:

- kpọpụta ala dị icheiche ebe emereme ndị dị n'akụkọ ifo na-agbado ụkwụ.
- nye ọmụmaatụ site n'ifo ụfọdụ maka ala emereme ndị a.
- kọwapụta ndịiche dị n'ala emereme ndị ahụ a na-ahụta n'akụkọ ifo Igbo.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Ntọala Ifo

Emereme dị n'akụkọ ifo abụghị otu. E nwegasịrị ebe dị icheiche ihe ndị na-eme n'akụkọ ifo nwereike gbado ụkwụ wee mee. Ntọala Ifo na-abụkarị n'ala mmadụ, ala ụmụanụmanụ, ala mmụọ na eluigwe. A na-enwekwa ngwakọrịta n'ala emereme ndị a.Abịa n'ifo, isi n'otu ala gafee

na nke ọzọ dị ezigbo mfe, n’ihi na mmadụ na-aga ala mmụọ lọtakwa n’otu ntabi anya. A ga-elebazianya n’ala emereme ndi a n’otu n’otu.

### 3.1.1 Ala Ụmụmmadụ

Ọtụtụ akụkọ ifo Igbo na-enwe ntọala ya n’alammadụ. N’ifo ntọala ya bụ n’ala mmadụ, na-egosipụta ka ndị Igbo mmadụ si ebi ndụn’ụwa. A na-enwe ụdị ezinaụlọ dị icheiche; ebe nwoke lụrụ ọtụtụ ụmụnwaanyị maọbụ otu nwaanyị; ebe nne bi ụlọ nwụrụ, di ya aga lụru nwunye ọzọ nke ga na-emegbu ụmụ maọbụ nwa nwunye nke nwụrụla anwụ. A na-enwekwa esemokwu ezinaụlọ nke ndị nwunye di na nwunye di, nwanne na nwanne, ọnọdụ nwa enwenne, nsogbu amụtaghị nwa nwoke, dgz. N’ụdị ifo dị etu a, a na-ahụ mmegbu, ịta ahụhụ, mkpọrọ masị, obi ọjọọ, nnupụisi, mana abịa n’ikpeazụ a na-enweta ihe nlekwasị anya nke bụ eziomume, maọbụ ezi ndụ maọbụkwa ezi ndụ. Ma ọ bụrụ n’ifo ahụ na-akụzi maka eziomume, a na-egosịpụta uru ọ bara ibi ezi ndụ site n’igosị ụgwọ ọrụ onye eziomume nakwa nke onye ajọ omume. A na-enweta kwa ndọrọndọrọ ọchịchị, usoro ịhọpụta eze, mmekọrịta mmadụ na ibe ha dịka ha si adị n’usoro ebindụ ndị Igbo kpọmkwe. Ọmụmaatụ: “Nwanyị Dechara Uri Bịa Gawa Ahịa” (*Ọka Mgba*)

**Nwaanyị Dechara Uri Bịa Gawa Ahịa**
Otu mgbe, otu nwaanyị mụtara otu nwa. Ya na nwa ya a dị na mma. Ọ dịghị ihe ọ na-eme ọ na-adịghị akara nwa ya. Ihe ọbụla nwa ya chọrọ ime ọ na-ekwuru ya. Ihụnanya dị n’etiti nne na nwa dị ukwuu.

N’ụbọchị ahịa ha, nwanyị a gara n’ama, ghọrọ uri ọ ga-ede n’ahụ. Ọ chọrọ ịde uri a tutu bịa gawa ahịa. Nwa ya gwara ya ka ọ ghara ịde; na mgbe ọ lọrọ ahịa ya edewe. Ọ kpọchiri ntị, gwee uri ahụ, dee n’ahụ. Uri ahụ o dere hiri ya nke ọma. Ahụ ya ana-atụ agwụgwa agwụgwa. Ya akwakọtaa abọ ya, gawa ahịa.

Mgbe o ruru n’ahịa, ụmụ mmadụ gbara ya elile, jaakwa ya n’ihi mma ọ mara. Site n’ihi ọjịja ndị mmadụ jara ya, oyi amatuo ya. Ya akwakọtaa abọ ahịa ya, buru lọta n’ụlọ. Ma ọ nọtula n’ụlọ, ahụ ọkụ ahụ akarịchaa ya njọ. Ọ raghị ahụ ya anwụọ. Nwa ya amalite bewe akwa, si,

> Nne dechara uri bịa gawa ahịa,
> Ngeere ngere,
> ngeerenge ngete ngee i,
> Ngeere ngere
> Ahia agbaghi uri abia lewe Nne,
> Ngeere ngere,
> ngeere nge ngete ngee i,
> Ngeere ngere.
> ngeere nge ngete ngee i,

Ngeere ngere.
ngeere nge ngete ngee i,
ngeere ngeere.

E buru ozu nne ya ga lie.
Onye nwa ya kaara ụka, ya nụrụ ya. (Iroaganachi, J (1973: 1-2).
Ọ bụrụ na i lebamie anya n'ifo a nke ọma, ị ga-achọpụta na ọ bụ naanị n'ala mmadụ ka ntọala gbadoro ụkwụ wee mee. N'ihi ya ifo a bụ ezigbo ọmụmaatụ ifo ebe emereme ya bụ n'ala mmadụ.

**NNWALE ONWE 1**

1. Were otu ọmụmaatụ gosipụta otu ebeemereme ifo nwereike isi gbado ụkwụ n'ala mmadụ.

## 3.1.2 Ala Ụmụanụamanụ

Ntọala ifo nwekwaraike bụrụ n'ala ụmụanụmanụ. Ọ bụrụ na ntọala ifo a bụrụ naanị n'ala ụmụ anụmanụ, ihe ọ pụtara bụ n'ihe niile ga-eme n'ifo ahu. ga amalite ma kwụsịkwa n'ala ụmụanụmanu. Ọ gaghi. enwe emereme ga eme n'ala ụmụmmadụ, ala ụmụmmụọ maọbụ n'eligwe maọbụ n'ebe ọzọ. Ifo ndị ntọala ha n'abụ n'ala ụmụanụmanụ na-enwekwa ụmụanụmanụ dịka agwa ndị na-agbaelu n'ụdị ifo ndịa ahụ. Ifo ndị gbadoro ụkwụ n'ala ụmụanụmanụ na-emetutakarịakụkọ ụmụanụmanụ. Ụdị ifo ndị a na-abụkarị ugogbe e ji ahụta ndụ ndị nwe ifo ahụ, na nke a ọ bụ ndị Igbo. E ji ifo ndị dị otu a egosipụta usoro ebibi ndụ ndị Igbo n'ihe dị icheiche na-eme n'ala Igbo na na ndụ ha. Ụdị ifo dị otu a nwere ike gosipụta usoro mmekọrịta na-adị n'etiti ndị Igbo; otu ha si edozi esemokwu n'eitite onwe ha, otu ha si alụ nwaanyị, eli ozu, ụdị ọrụ dị icheiche ha n'arụ, dgz. Ọmụmaatụ: "Egwu na-atụ ka Ọgwụ" *(Ọmalinze).*

**Egwu na-atụ ka Ọgwụ**
Otu mgbe n'ala ụmụ anụmanụ, onye isi ha bụ Enyi wee ghọta ihe ịzụ ahịa jiri dị mkpa, wee kpọkọlata ụmụ anụmanụ, ha bido ịrū nnukwu ahịa. Obi tọrọ ha ụtọ nke ukwu na ha ga-enwe ahịa nke aka ha.

N'izizi, Mbe were onwe ya ka onye na-enyere Enyi aka, na-elekọta ọrụ a na-arụ ma mgbe ọ hụrụ na ọ bụzị sọọsọ Enyi ka a na-eto, o wee nwebe anya ọkụ n'ebe Enyi nọ, chọbakwa ụzọ ọ ga-esi mebie ọrụ ahụ niile.

O teghị aka ha arụchaa ahịa ha. Ụmụ anụ niile wee kaa ụbọchị ha ga-emeghe ahịa ahụ. Ha kwadochaa ihe dị iche iche maka oriri na ọṅụṅụ a ga-eji meghe ahịa nke a. Mbe bụ onye kwadoro ihe dị iche. Nke mbụ, ọ gara weta isi mmanwụ ọnụ ya ghere oghe. E tinyekwa n'ọnụ ya ihe na-

eme mkpọtụ dị ka nke ajọ mmụọ ndị ụmụ anụmanụ na-asọ asọ. Nke abụọ, o je zoo n'ọhịa dị nso ahịa.

Nwantịtị oge ahịa agbajuo, na-ekwozi ekwo Mbe wee tie mkpu, tisie mkpu ahụ ike, olu ya adịzie ka nke ajọ mmụọ ahụ ụmụ anụ na-asọ asọ. Ụjọ wee baa ụmụ anụ niile n'ahụ. Ahụ beriberi ekweghị ha eche ka ha mata ihe na-eme mkpọtụ a, kama ha niile zọjiri ọsọ. Nke a mere na n'otu ntabianya, ahịa ahụ adaa korii. Mbe wee pụta rijuo afọ ya n'anụ na azụ na ihe ụtọ dị iche iche ha kwadoro maka emume a, wee buru ndị ọzọ labaa n'ụlọ ya.

Ihe a wee gbagwojuo ụmụ anụ anya, ha wee kpọọ nzukọ ka onye ọbụla n'ime ha kwuo ihe o chere a ga-eme wee kwụsị mkpọtụ nke a. N'ime nzukọ, ụfọdụ asị ka ha jee n'afa jee chọpụta ihe na'eme mkpọtụ a. Ndị ọzọ asị na o were ha anya na ọhịa ebe a rụrụ ahịa na-ewe iwe na a gwaghị ya tupu ha emeghe ahịa, na ihe ka mma bụ ka a chụọ aja nye ọhịa ahụ ka obi wee dị ya mma. Ndị ka n'ime ha sị na ọ bụ iche nche n'ahịa ka mma, ka ha mara ma ha ga-ejide ihe na-eme mkpọtụ a.

Ihe ọzọ bụzị onye ga-eche nche ahụ, ha kpọkuo anụ ndị chara anya ka ha wepụta onwe ha bịa chee nche, ma o nweghị nke kwere, ọ bụnadị Agụ, maọbụ Ọdụm, ma ọ bụzịkwa Enyi. Mbe wee sị ha na ihe ka mma bụ ka ha họpụta onye isi na-agaghị ahụ ihe na-eme mkpọtụ a anya ma ọ ga-enwe ike ijide ya ma o soro uda mkpọtụ ahụ. N'ihi na ụmụ anụmanụ niile na-asọpụrụ Mbe maka amamihe, ha niile ekwenye n'okwu a. Ha kaa ụbọchị ọzọ a ga-emezi emume imeghe ahịa wee gbasasịa.

Mgbe ụbọchị ahụ ruru ahịa gbajuo, Mbe mekwaa etu o mere na mbụ wee kpasuo ụmụ anụ na mkpọtụ ọjọọ ahụ. Ahịa wee daa korii ọzọ sọọsọ onye isi na-achọ ụzọ o si agbapụ ka mkpọtụ na-emezi ike wee na-abịa ya nso, ọ dị ka ntị ọ ga-echi ya. Mbe na-achị ọchị ka onye isi na-ada n'abili ebe ihe dịgasị n'ahịa na-akpọbuga ya. E mechaa, ọ kpọ ngwu n'ime olulu dị n'aga ụzọ, wee nwụọ ebe ahụ. Mbe pụtakwa ọzọ họrọ cha ihe tọkarịchara ụtọ n'ahịa ahụ wee rie, wee ṅụọetu ọ dị ya mma.

Mgbe ụmụ anụ niile gbaghachiri azụ ịjụ onye isi ihe merenụ, ha ahụghị ya. Ha chọọ ya n'elu chooya n'ala wee mecha hụ ozu ya ebe ọ dị n'olulu. Ha gbakọzuo n'olulu wee bebe akwa. Ha si na ahịa nke a ebuterela ha ihe ọjọọ karịa ihe ọma, sị ọ bụrụ na ha ma gharakwa ịlụya. Enyi wee kasie ha obi sị ha gbaa mbọ chọta ihe na-arụ ala nke a. N'ebe ahụ ka Ngwere nọ wepụta onwe ya sị ka ya chee ahịa ahụ nche. Ụmụ anụ wee kakwa ụbọchị ọzọ emume ahụ ga-abụ.

Tupu ahịa ahụ agbajuo, Ngwere arịgola n'elu osisi nọdụ na-eche ka ya mata ihe na-arụ ala nke a. Mbe agaa mekwa etu o na-eme mbụ. Ndị ọzọ agbapụchaa n'ahịa, ọ bụrụ sọọsọ Ngwere nọ n'elu osisi na-emegharị

ahụ. Mgbe Mbe pụtara, wepụ isi mmanwụ ya, wee bido na-eri anụ dị n'ahịa, Ngwere arịtuo n'elu osisi wee tie, 'Mbe ee aghụghọ, anụ ana-eze ndụ, ejidela m gị. Mbe rịọ ya biko ka ọ ghara ịkọrọ ụmụ anụ ndị ọzọ wee kwe ya nkwa imere ya ọtụtụ ihe. E mechaa, Mbe sị ya bịa soro ya rie anụ ahụ. Ngwere ajụkata ajụ, ma kwere ịga rie anụ, ma obi ya esielarịị ike na ya ga-ekpe Mbe n'aka ụmụ anụmanụ niile.

Mbe sị Ngwere, 'Buru ụzọ nye m anụ n'ọnụ, e mechaa aga m enye gị ụrụghụrụ anụ n'ọnụ gị. Etu a ka ọ ga-atọkarị ụtọ'. 'Ngwere wee kwere, buru ụzọ nyejuo Mbe ụrụghụrụ anụ afọ, mgbe Mbe chọrọ inye Ngwere anụ nke ya, o were ọkpụkụ rụnye n'akpịrị ya, ọ gbado Ngwere. O nweghị ike ikwu okwu ma ọ bụ ikù ume. Mgbe ọ nọ na-akụ isi ya n'ala ka ọ mata ma ọkpụkpụ ahụ ọ ga-apụ, Mbe agbalaga. Otu a ka ọ na-akụ isi ya wee ruo mgbe ụmụ anụmanụ niile zukọrọ. Ha jụọ ya ọtụtụ ajụjụ, ma o nweghị ike ịza ha. Ihe a ewee ụmụ anụmanụ iwe ha ghara Ngwere laba. (Ọ bụ ihe a mere Ngwere ji akụ isi n'ala wee ruo ugbu a.)

Ma etu ọ dịna, ụmụ anụmanụ ekweghị ahapụ ịchọ ihe na-eme mkpọtụ nke a dị egwu. Ya mere ha ji kpọọ nzukọ ọzọ nke Mbe na-anọghị ya. Ha wepụta otu onye ntị chiri n'ime ha, gosị ya etu ọ ga-esi mee ma ọ bụrụ na ọ fụ onye na-eme mkpọtụ a. Ha kwukwa ka ha ghara ịgbalaga n'ụlọ ha kama ka ha tụọ nzu n'otu ebe eteghị aka n'ahịa.

Mgbe oge Mbe ji arụ ala ahụ ruru, ya etie mkpu ahụ ọzọ, mekwa mkpọtụ nke ka nke, ụmụ anụ niile wee zọjirikwa ọsọ. Mbe cherenọọ ka ebe niile daa korii. O lee anya n'elu na n'ala, tupu ọ pụta. O wepụ isi mmanwụ, ozigbo onye ntị chiri hụrụ Mbe, ọ gbara gaa kụọrọ ụmụ anụmanụ niile aka ka ha bịa. Ha wee zọrọ ọsọ bịa n'ike wee nwụọ Mbe chịm. Ha makwasị ya ka ha dọrisie ya irighiri ma Mbe rịọrọ ha ka ha gee ntị na ụbọ ya ga-akpọrọ ha. O welie ụbọ ya kpọ sị.

Ụbọ m na-àtọ … *anatongeri*
Ụbọ m na-àtọ … *anatongeri*

Ụmụ anụmanụ niile ebido gbaba egwu nke tọrọ ha ụtọ hie nne. N'ime ụzụ aghara ịgba egwu na ịgụ egwu, Mbe ewere nwanyọọ mipụọ onwe ya, gbalaga. Mgbe ụtọ egwu ahụ hapụrụ ụmụ anụmanụ ha legharịzie anya, ma ha ahụghị Mbe, ha wee laa na mwute. (Emenanjo, 1977: 153-155).

Ifo a bụ ezigbo ọmụmaatụ ifo ala emereme ya bụ n'ala ụmụanụmanụ, n'ihi n'ihe niile mere n'ifo bụ n'ala ụmụanụmanụ ka ha mere.

**NNWALE ONWE 2**

1. Emereme dị n’akụkọ ifo ndi Igbo nwereike gbado ụkwụ n’ala ụmụanụmanụ. Tụlee nke a.

## 3.1.3 Ala Ụmụmmụọ

Ụfọdụ ifo nwekwaraike mee n’ala ụmụmmụọ, kama na nke a a naghị adi ike ọtụtụ. Ihe ana-enwekarị bụ ebe emereme dị n’ifo nwereike malite n’ala ụmụmmadụ maọbụ n’ala ụmụanụmanụ wee gaa n’ala ụmụmmmụọ. N’ụdi ifo dị otu a, mmadụ maọbụ mmụọ nwereike gaa n’ala ụmụmmụọ ha na ụmụmmụọ e nwee mmekọrịta. N’ala mmụọ ndị mmụọ na-anwụ anwụ, ha n’alụ nwaanyị, gbaa mgba maọbụ gaa ahịa n’akụkọ ifo.

**NNWALE ONWE 3**

Chọpụta ọmụmaatụ atọ akụkọ ifo ndị ala emereme ha gbadoro ụkwụ n’ala ụmụmmụọ site n’akwụkwọ ndị a họpụtara maka ihe ọmụmụ a.

## 3.1.4 Ngwakọrịta n’Eebe Emereme

Ntọala emereme dị n’ifo Igbo nwereike malite n’otuebe garute ebe ọzọ. Ihe nke a pụtara bụ na ntọala emereme dị n’ifo nwereike malite n’ala mmadụ, kwụsị n’ala ụmụanụmanụ; ntọala akụkọ ifo nwekwaraike malite n’ala ụmụanụmanụma kwụsịkwa n’ala ụmụmmadụ. N’akụkụ nke ọzọ ntọala ifo nwereike malite n’ala mmadụ, gaa n’ala mmụọ ma kwụsịzie n’ala ụmụanụmanụ. O nweghị otu usoro nke e wepụtara maka igbaso n’ebe ntọala akụkọ ifo dị. Ọ bụ okenaọrụ dịrị ọkọakụkọ ịmata usoro nke ga-aka ewepụta ihe ọ chọrọ nkeọma karịa, ma gbasoo ya. E nwekaraike inweta akụkọ ifo ntọala ya bụ n’eluigwe dịka ọ dị n’akụkọ ifo nke dị n’*Ọmalinze*, ebe ụmụanụmanụ gara n’eluigwe ịmata nke ga-eguzogide n’etiti mmadụ nwụchaa, ọlaghachikwa na ndụ maọbụ mmadụ nwụọ, ọ gaghị enweike ịpụta ọzọ. Ọmụmaatụ: akụkọ ‘Mbe na Nduru’nke dị n’akwụkwọ akụkọ*Mbediọgụ.*

**Mbe na Nduru**

O ruru otu mgbe, Mbe gwa nduru ka ha bụrụ enyi. Nduru wee kwere. N’echi ya, ha abụọ gaa n’agiga-ọhịa wee mee ubi ebe ha kụrụ okpodudu na ede. Ma mgbe owuwe ihe ubi ruru, ha abụa wee gaa chịkọta ihe ahụ niile kee ya n’ọba. Ogologo arọ ahụ niile ha na-ewere okpodudu na-eri. Ma mgbe ihe ahụ malitere ịgwụ n’ọba, Mbe wee were aghụghọ ka ha sisirị nri, sị “Tupu onye ọ bụla erie ihe a anyị siri, ya buru ụzọ kpọọ aha ya.” Nduru jụa Mbe ọ bụ n’ihi na ya na-asụ nsụ ka o jiri tie iwu a? Mbe kpọọ aha ya ozigbo, wee ribe nri. Nduru wee malite ịsị “Kpokpodudu, dukpo, ikpodu, kpodukpo, dudukpokpo.” Mbe sị ya na ọ kpọtaghị ya.

Ka ọ na-agba mbọ ịkpọta ya, Mbe erichapụ nri zararam,hichaa ọnụ. O rue, oge ọzọ, ha sisịa nri Nduru wee sị Mbe, "Tupu onye ọ bụla e rie ihe a anyị siri, ọ ga-ewere mmiri saa aka ya ma ọ gaghị ebi ya n'ala ma ọlị wee jee n'oche o ji nọdụ ala." Nduru gaa ngwa saa aka ya, fegote n'oche, nọdụ, malite iri ihe.

Mbe wee jee ịsa aka; o wee welie anya na-ele enyi ya ka ọ na-eri nri n'ike n'ike. O were iwe saa aka ya; ma mgbe ọna-arịgola, o biela aka ahụ n'ala n'ihi na ọbụ ya ka o ji aga ije. Otu a ka o mere ọtụtụ oge ma o nweghị ike. O were iwe dị ọkụ jee nọdụ ala na-akwa akwa; Nduru erichapụ nri ahụ wee na-achị ya ọchị. Ụgwọ na ụgwọ wee tanaa.

Ọ bụrụ na i lee anya nkeọma, ala-emereme dị n'akụkọ a, ị ga-ahụta n'ihe niile mere n'ifo bụ n'ala ụmụanụmanụ ka ọ gbadoro ụkwụ wee mee.

**NNWALE ONWE 4**

1. Agwa dị n'akụkọ ifo Igbo nwereike bụrụ otu maọbụ karịa. Tụlee nke a.

## 4.0 MMECHI

Na mmechi, ntọala akụkọ ifo ndị Igbo nwere ike bụrụ otu, abụọ maọbụ atọ. A na-enwe isi n'otu ntọala gafe na ntọala ọzọ. Akụkọdị n'ifo nwekwaraike gbado ụkwụ na naani n'otu ntọala wee mee.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọtaiheọmụmụ yunit nke a, anyị lebara anya n'ebe emereme ndị dị n'akụkọ ifo Igbo nwere ike ịgbado ụkwụ wee mee. Anyị hụkwara na ọ bụ okenaọrụ dịrị ọkọakụkọ ịhọrọ ntọala ga-enyere ya aka iwepụta isiokwu na ihe mmụta dị n'akụkọ ya nkeọma.

## 6.0 IHE OMUME

1. Were eserese dabara wee gosipụta natọala akụkọ ifo Igbo.
2. Were ọmụmaatụ kwesịrị site n'akwụkwọ akụkọ ifo ndị i ji wee mụọ ihe gosipụta akụkọ ifo ntọala ya nwere ngwakọrịta n'ala madụ na n'ala mmụọ.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. PhD Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Ifionu, A. O. (n.d.). Typology of Igbo Folktales. In *Aǹụ Magazine* (3) 61-70.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara.* Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Nigeria: Africana First.

Okpewho, I. (1992). *African Oral Literature: Backgrounds, Character, and Continuity.* Bloomington: Indiana University Press.

Thompson, S. (ed.) (1977). *The Folktale*. Berkeley: University of California Press Ltd.

# MODUL 2 IHE NDỊ NA-AGBA ELU N'AKỤKỌ IFO


Yunit 1 Isiokwu Ifo
Yunit 2 Uru Ifo bara
Yunit 3 Ihe ndị na-echere akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a


## YUNIT 1 ISIOKWU IFO

### NDỊNA


1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
 3.1 Isiokwu ifo
 3.2 Isiokwu ndị na-egosipụta ezi agwa/omume ndị kwesịrị nṅomi
 3.3 Isiokwu ndị na-egosipụta ajọ/omume ndị e kwesiri izere
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi


### 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo na-enwe ọtụtụ isiokwu nke a na-esite n'ime hawee na-akuziri ụmụaka eziomume, ibi ezi ndụ, ikpa ezi agwa, inwe akọnauche, usoro ebimndụ, omenala na nkwenye ndị Igbo.N'iheọmụmụ yunit a, a ga-elebanye anya n'ụfọdụ isiokwu ndị na-agba elu n'ifo Igbo.

### 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha iheọmụmụ yunit a, ị ga-enweike:

- kpọpụta ụfọdụ isiokwu ndi a na-enwe n'akụkọ ifo igbo
- nye ọmụmaatụ site n'ifo ụfọdụ ebe isiokwu ndi a putara ihe
- kọwapụta ka isiokwu ndi asi enye aka n'izulite ụmụaka.

### 3.0 NDINA KPỌMKWEM

### 3.1 Isiokwu Ifo

Akụkọ ifo Igbo ọbụla na-enwe isiokwu nke ọ na-agbado ụkwụ na ya wee nye nkuzi maọbụ mmụta. Isiokwu ndị na-adị n'ifo Igbo nwere ndị ne-ezipụta eziomume maọbụ eziagwa nke ụmụaka kwesịrị inwe maọbụ

ińomiri; n’aka nke ọzọ, e nwekwara isiokwu ndị na-ewepụta agwa maọbụ omume ndị e kwesịrị izere. Mana n’agbanyeghị ụdị isiokwu nke dị n’ifo ọbụla; mbunuche eji enwe isiokwu ndi a n’ifo bụ iji ha kuziere ụmụaka eziomume, otu ha kwesịrị isi na-ebi ndụ n’ebe ọbụla ha hụtara onwe ha tinyekwara iji wee mee ka ha mata ụdị akparamagwa ndị na-adịghị mma, ndị ha kwesịrị izeere. Ọ bụrụ n’akụkọ ifo ndị gosipụtara omume ọjọọ dịka igbu madụ, imegbu mmadụ maọbụ inwe anyaukwu, a na-agba mbọ n’ikpeazu i gosipụta otu akparamagwa ọjọọ ndi ahụ si wee nweta ntaramahụhu n’ikpeazụ. Nke a bụ iji wee kuzie na n’agbanyeghi na n‘oge ụfọdu na ọ na-adị ka ihe ọjọọ o na-achọ imeri ihe ọma; mana n’ikpeazụ na ọbụ ihe ọma na-emeri. Nke a mere oji dị mkpa na onye ọbụla zere ihe ọjọọ ma jidsesie ihe ọma aka ike.

Ụfọdụ isiokwu ndị na-agbaelu n’ifo Igbo gụnyere: ihunanya, obiebere, anyaukwu, mmegide, okeọchịchọ, amamihe, ịkpọasị (akpọmasị), ime nganga, asịri, akpịri/ụsa. A ga-eleba isiokwu ndi a anya n’otu n’otu. Otu ifo nwekwaraike inwe isiokwu abụọ maọbụ karịa dịka ọdị n’akụkọ ‘ihirihiri’ nke dị n’akwụkwọ akụkọ *Ọmalinze*. N’akụkọ a e nwere isiokwu mmegide, anyaukwu, anyaike na amamihe. Otu aka ahụkwa, akụkọ ‘Ifeyinwa’ dị n’*Ọmalinze* nwere isiokwu abụọ, nke bụ obi ebere na obi ọjọọ. N’akụkọ a, Ọgịnị gosiri obi ebere n’ebe Ụkabụnọnụ nọ site na iwere nnukwu ụdọ toro ogologo kechie n’ukwu osisi dị n’ikpere mmiri ahụ Ụkabụnọnụ dabara n’ime ya, were isi ụdọ tụpụrụ Ụkabụnọnụ na mmiri. Ụkabụnọnụ wee ghọrọ ụdọ ahụ nke nyere ya aka ịpụta na ajọ mmiri ahụ ọ dabara n’ime ya. Mbe, n’akụkụ nke ya gosipụtara ajọ obi site na ikugbu Ọgịnị n’ihi na ọ chọrọ ịlụ Ifeyinwa.

**NNWALE ONWE 1**

1. Depụta isiokwu ise ndị ọzọ e nwere ike ịhụ n’akụkọ ifo Igbo nke na-esoghị na ndị edepụtarala n’ime iheọmụmụ a.
2. Chọpụta ma detuo akụkọ ifo abụọ ebe e nwere isiokwu nnupuisi na nrubeisi.

## 3.2 Isiokwu Ndị Na-egosipụta Ezi Agwa/Omume Ndị Kwesịrị Nṅomi

Dika e kwurula, isiokwu ndị a na-ahụta n’akụkọ ifo Igbo nwere ndị na-egosipụta eziagwa/omume ndị e kwesịrị ịṅomi. N’ebe a a ga-elebanye anya n’isiokwu ụfọdụ ndị ahụkwesịrị nṅomi na omụmaatụ akụkọ ifo ndị a ga-enweta ha n’ime ha. Ụfọdụ isiokwu ndị ahụ na-egosipụtaeziomume ndị ahụ kwesịrị nṅomi gụnyere ndị a: ihunanya, obiebere, amamihe, nrubeisi, nsọpụrụ, mmekorita mmadu na ibe ya dgz. A ga-ebezi ha anya n’out n’otu n’ebe a.

**i. Ịhụnanya**

Otu n'ime isiokwu a na-enweta n'akụkọ ifo Igbo bụ ihụnanya. Akụkọ ifo ọbụla nwere isiokwu ịhụnanya na-ewepụta agwa ndị gosipụtara ihụnaya. E ji ụdị ifo ndị dị otu a na-akọwa maka ịhụnanya na mkpa ọ dị mmadụ ịhụ ibe ya n'anya. Ọmụmaatụ*Nza na Obu* "Ọjị bụisi Omume".

**ii. Obiebere**

Ụfọdụ akụkọ ifo na-enwe isiokwu obiebere. Nke a bụ ifo na-egosịpụta obiebere. E ji ụdị ifo dị otu a akuziri umụaka mkpà ọ dị mmadụ ị na-enwe obi ebere n'ebe mmadụ ibe ya nọ. Ọmụmaatụ, "Anụ Tụrụ Agwa ga-alụ Ọnalụ" nke di n'akwụkwọ *Ọmalịnze*.

**iii. Mmekọrịta Mmadụ na Ibe Ya**

Isiokwu dị n'ifo Igbo nwere ike bụrụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ndi Igbo bụ ndi na-achọ mmekọrịta n'etiti onwe ha dịka osi dị n'ọtụtụ mba Afịrịka. Mmekọrịta n'etiti onwe ha bụ ihe ndị Igbo ejighi egwu egwu. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha ji enwe ọgbakọ n'etiti onwe ha na-agbanyeghị obodo ha hụtara onwe ha n'ime ya. Mmekọrịta dị otu a na-agba elu n'ọtụtụ akụkọ ifo Igbo; n'ụdị ifo ndị ahụ na-egosipụta ebe umụanụmanụ na-enwe ọgbakọ iji wee kpaa maka ihe ndị na-emetụta ha. Ezigbo ọmụmaatụ akụkọ ifo nwere isiokwu mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị na n'akụkọ "Ihe Kpatara na Ihe Ọma Mee Egbuo Ọkụkọ Nke Ọjọọ Mee E gbuokwa Ọkụkọ" nke dị n'ime *Éké Na Égwùrùgwù.*
Chọpụtagasịzie ọmụmaatụ ndị ọzọ.

**iv. Amamihe**

Isiokwu di n'ifo nwekwara ike bụrụ amamihe. Ụdị Ifo a na-akọwara anyị maka mmadụ inwe amamihe. E ji ụdị ifo isiokwu ya bụ amamihe akụziri ụmụaka mkpa amamihe dị na ndụ mmadụ. Ọmụmaatụ: N'*Ọka Mgba,* akụkọ "Ụsụ Nzuzu na Ụsụ Akọ". Chọpụta ọmụmaatụ ndị ọzọ.

**v. Nrubeisi**

Isiokwu ọzọ na-adị n'ifo Igbo bụ isiokwu nrubeisi. A na-esite n'udi ifo ndi isiokwu ha na-agbado ukwu na nrubeisi akuziri umaka mkpa nrubeisi na oghom na-eso nnupuisi. Ọmụmaatụ: akụkọ "Òbiadị̄" nke dị n'*Ọmalinze*.

**Òbiadị̄**

Otu nwoke na nwunye ya mụtara ụmụ nwoke asaa. Nke bụ obere nwa n'ime ha ka a na-akpọ Òbiadị̄. Nne na nna Òbiadị̄ na ụmụnne ya dum hụrụ ya n'anya nke ukwu n'ihi na ọ mara mma nke ukwu. N'ihi ya ha zụtaara ya otu ọja. Ọja ahụ mere ka obi na-adị ya ụtọ mgbe niile. Ebe ọbụla ị hụrụ Òbiadị̄, ị hụ ya ọja n'ọnụ. Mmadụ dum were ọja ahụ mara

ya nke ọma. Otu ụbochị o soro ndị mụrụ ya na ụmụnne ya gaa ọrụ n’ubi o chefuru ọja ahụ n’ubi ahụ mgbe ha na-ala.

Mgbe o cherata ọja ya ka ha laruru ụlọ n’etiti ehihie, o wutere ya nke ukwu, o wee malite ịkwa akwa sị na ya ga-alaghachi azụ n’ubi ịchọ ya. Ma mgbe o kwuru nke a nne ya na nna ya na ụmụnne ya malitere ịrịọ ya ka ọ hapụ ịga n’ubi n’etiti ehihie ahụ n’ihi na ndi mmụọ na-anọ n’ụzọ n’etiti ehihie ọbụla, na ha na-elokwa nwata ọ bụla ha hụrụ n’ụzọ. Ha kwekwara ya nkwa ịzụtara ya ọja ọzọ ga-amakarị nke mbụ na mma mana o geghị ha ntị, kama ọ nọdụrụ ala n’otu akụkụ na-akwa akwa, jụkwa iri nri ehihie nke ya. Ka nne ya na nna ya na ụmụnne ya nọ na-eri nri ehihie nke ha, ọ dịghị onye maara mgbe Òbiadị̄ jiri zopụ were ọsọ gawa n’ubi ahụ ịga chọọ ọja ya.

N’etiti ụzọ ọ malitere izu ndị mmụọ dị icheiche. Mgbe nke mbụ o zutere bụ naanị otu isi hụrụ ya, ọ kwụsịri ya, jụọ ya ajụjụ sị, ‘Nwa ntakịri a adịghị atụ egwu, olee ebe ị na-aga?” Òbiadị̄ wee kọwaara ya na ya na-aga ịchọ ọja ya ya chefuru mgbe ha gara ọrụ n’ubu n’ụtụtụ, ma o geghị ntị n’ihe ọ na-agwa ya. Mgbe ọ na-achọzị ilo ya, oke egwu malitere ịtụ Òbiadị̄, o wee malite ịbụ abụ a wee rịọ ya sị:

| | |
|---|---|
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṅne m̄ sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṇnà m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Ụmụ̀nnē m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà m̀mụọ̄ nọ̀chìrì n’ọnụ ụzọ̀; | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |

Mgbe o kwusịrị ihe ndị a, ebere ya mere mmụọahụ nke ukwu, o wee hapụ ya. Ma kama ọ ga-alaghachi azụ, o zuzuru ka atụtụ na-aga n’ubi ịga chọọ ọja ya.

N’oge na-adịghị anya o zutekwara mmụọ nke bu isi abụọ. Tutu nke ahụ ajụọ ya ihe ọbụla ọ malitere ịbụkwa abụ sị ya:

| | |
|---|---|
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṅne m̄ sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṇnà m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Ụmụ̀nnē m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà m̀mụọ̄ nọ̀chìrì n’ọnụ ụzọ̀; | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |

Mmụọ nke abụọ mekwaara ya ebere, hapụkwa ya ọ gafere.
Ka ọ na-agakwa o zutere mmụọ bu isi atọ dị n'ụdị agadi nwaanyị. Mgbe ọ jụrụ ya sị ya:

| | |
|---|---|
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ǹne m̄ sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṇnà m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Ụmụ̀nnē m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà m̀mụọ̄ nọ̀chìrì n'ọnụ ụzọ̀; | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |

Agadi nwaanyị mmụọ ahụ wee lee ya anya sii, sị ya, 'O o nwa m, ebe ọ bụ na ị chọghị ịnụ ihe ndị mụru gị na ụmụnne gị gwara gị, gawa na gị bụ e kweghị ekwe ga-ekwe n'ute ekwere.' Nke a mere ka egwu tụọÒbiadị̄ nke ukwu ma mgbe ahụ ọ mazighiihe ọ ga-eme. Jewe ejewe ekweghi ya, lawa alawa ekwekwaghị ya. O wee guzo n'ebe ahụ nwa oge na-eche ihe ya na ụwa ga-eme. N'ikpe azụ o tichitere obi gawa ịchọ ọja ya.

Ka ọ na-aga o zutere mmụọnke bụ isi anọ, na nke bu isi ise na nke bu isi isii rịọkwa ha otu o siri riọ ndị mmụọ atọ o buru ụzọ zute, ha mekwaara ya ebere, hapụkwa ya, o wee na-aga n'ihu n'ije ya wee ruo mmụọ nke asaa obi jọgburu onwe ya, nke agwọ ojii asaa nọ n'isi asaa ya; na nke anwụrụ ọkụ na-apụ n'ahụ ya dum. Mgbe Òbiadị̄ hụrụ ya, ahụ malitere ịma ya jijiji, o wee na-ariọ ya sị

| | |
|---|---|
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nwa mmụ̄ọ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ǹne m̄ sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà ṇnà m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Ụmụ̀nnē m sị̀kwọ̀rọ̀ m̀, ejēla; | *Mèere m̄ eberèè* |
| Nà m̀mụọ̄ nọ̀chìrì n'ọnụ ụzọ̀; | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |
| M̀mụọ̄ bikō … | *Mèere m̄ eberèè* |

Ka ọ na-abụ abụ a, ajọ mmụọ ahụ wepụrụ ihu ya. O geghịkwa ntị n'ihe ọna-agwa ya. Mgbe ọ bụsịara, ọ sịrị ya, 'Nwa m, ori anụ ọ na-eri anụ awọ? Ebe ọ bụ na gị bụ nwata sawara ụsa wee rie ogwumagala ị ga-aṅa afọ gị n'ọkụ ugbua; n'ihi na a sịrị na ọ bụ ịhụchata ụzọ ka mgbọ ji atụ enwe n'isi.' Mgbe o kwusịrị ihe ndị a o buru Òbiadị̄ loo n'afọ ya.

Mgbe nne na nna Òbiadị̄ na ụmụnne ya risịrị nri ehihie, lee anya Òbiadị̄ n'ebe ọ nọrịị akwa akwa ma ha ahụghị ya, ha malitere ịchọgharị ya. Ka ha chọrọ ya n'elu chọọ ya n'ala ma ha ahụghị ya, ha zipụrụ nke tọrọ ya ka ọ gaa n'ụzọ gara n'ubi ahụ chọọ Òbiadị̄. Mgbe o rutere n'ụzọ ahụ zute ajọ mmụọ ahụ o lokwara ya n'afọ ya. E mesịa ha zipụkwa nke

atọka ọ gaa chọọ Òbiadī̃ na nwanne ya. Mgbe o lutere n'ebe ahụ ajọ mmụọ ahụ lokwara ya. Nne ha na nna ha wee na-ezipụkwa ụmụ ha ndị fọdụrụ nọ n'ụlọ otu otu ka ha gaa chọọ ụmụnne ha na-efu efu wee ruo mgbe ajọ mmụọ ahụ losịrị ha asaa. Mgbe nne ha cheere ụmụ ya ma ha alataghị ọ kwara akwa gawa ịchọ ụmụ ya.

Mgbe o zutere ajọ mmụọahụ o lokwara ya n'afọ ya. N'abalị mgbe nna ha ahụzịghị nwunye ya na ụmụ ya iwe were ya nke ukwu. O wee were mma o ji ete nkwụ na-aghọ nọọ karịa agụba e ji akpụ isi zọrọije n'ike n'ike gawa ịchọ ha. Mgbe ajọ mmụọ ahụ lokwara ya na mma nkwụ ya, ọ nọrọ n'ime afọ ya were mma ahụ gbawaa ya afọ. Mgbe ọ dara gwodoo ka osisi ụkwa kpọrọ nkụ, ya na nwunye ya na ụmụ ya isii pụtara, ma Òbiadī̃ apụtaghị n'ihi na o nwụworị n'ime afọ ya. Ha wee bupụta ozu ya, buru ya laa n'ụlọ ha. Mgbe e lisịara ozu Òbiadī̃ ọtụtụ mmadụ bịara ike na-ekele nna ha n'ike ọ kpara, na-ekwutọkwa Òbiadī̃ jiri isi ike wee gbu onwe ya, wetakwara ndị mụrụ ya oke ahụhụ.

Ihemmụta: Akụkọ a na-egosị okwukwe ndị Igbo nwere na ọ dịghị mma ka nwata na-enupụrụ ndị mụrụ ya na ndị okenye isi. N'echiche ndị Igbo o kwesịrị ka nwata na-eme e kwute ekwe wee ruo mgbe o topụtara mmadụ. Na mgbe ochie anyị nụrụ na a dịghị achọ nwata na-eme isi ike ma aka kpara ya.

Ifo a bụ ọmụmaatụ ifo na-egosi na nnupuisi adịghị mma; nwata kwesịrị ị na-erubere ndị tọrọ ya isi.

**NNWALE ONWE 2**

Were otu akụkọ ifo dabara adaba gosipụta ka irusi ọrụ ike siri bụrụ ihe kwesịrị nńomi na n'usoro ebimnndụ ndị Igbo.

## 3.3 Isiokwu Ndị Na-egosipụta Ajọ Omume Ndị E Kwesiri Izere

Isiokwu ndị a na-ahụ n'akụkọ ifo nwere ike ha agaghị egosipụta eziomume kpọmkwem; kama ha na-egosipụta ụfọdụ agwa abụghị agwa kwesịrị ekwesị ka ụmụaka ńomie. N'ebe a, a ga-elebanye anya n'ụfọdụ isiokwu ndị dị otu ahụ.

**i. Anyaukwu**

Anyaukwu so n'otu n'ime agwa adịghị mma, a an-atụ anya na ụmụaka ekwesịghị ińomi. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha ji wee na-agba elu dịka ụdị isiokwu a na-ahụta n'akụkọ ifo Igbo. Nke a bụ i ji wee kuziere ụmụaka ka ha zeere ajọ agwa dị otu a. Ifo dị otu a na-egosịpụta na inwe anyaukwu adịghị mma. Ọmụmaatụ "Eke Mbe agana Esu" *(Ọmalịnze,* "Mbe na Ndị Mmụọ na Ịgba Nri na

Ofe" (*Mbediọgụ)*na "Mbe na Ụmụnnụnụ" nke dị na *Nwaada Lọọlọ*.

**Mbe na Ụmụnnụnụ**

O ruru otu mgbe oke agụụ dara n'ala ụmụanụmanụ. ụmụanụmanụ enweghị onye nwere ike iri nri otu ugboro ka ọ fọdụkwa ugboro abụọ n'ụbọchị. Oke ọkọchị dakwara n'ala ụmụanụmanụ oge ahụ. Nke a mere ka nri niile ha kọrọ n'ubi ha n'afọ ahụ nwụsịsịa.

Mbe wee kpọọ ụmụnnụnụ, gwa ha na ọ ka mma ka ha gaa n'eluigwe ga hụ Chineke. Ha hụ ya, ha akọọrọ ya ahụhụ ha na-ata n'ụwa, rịọkwa ya ka o nye ha ihe oriri. Ọ rịọkwara ụmụnnụnụ ka ha buru ya n'azụ ha wee feruo n'eluikwe. Ụmụnnụnụ wee kweta ihe Mbe gwara ha. Ha wee kwọrọ ya n'azụ wee feruo n'eluigwe. Mgbe ha rutere n'eluigwe, Mbe kpọrọ ụmụnnụnụ wee sị ha na aha ya abụghịzi Mbe na aha ya bụzi "Ụnụniile". Ụmụnnụnụ kwetara nke a n'ihi na ha amaghị ihe Mbe bu n'uche.

Mgbe ha pụtara n'ihu Chineke, ha kọọrọ ya ihe ha ji maka ya bịa: na ụmụanụmanụ niile anwụchaala n'agụụ. Chineke meere ha ebere nke ukwu ma kwe ha nkwa na ọkọchị ahụ ga-abịa na njedebe, na ihe dum ha tinyere n'ala n'ubi ha ga-em nnukwu nri. Ka ha kwadoro ka ha lawa, Chineke kpọrọ ụmụ ya gwa ha ka ha bukọta nnukwu ihe oriri na ihe ọṅụṅụ nye ha ụmụnnụnụ nke ha ga-ebu laa n'ala ha ga rie, ha na ụmụanụmanụ ndị ọzọ. Oge Chineke nyechara ha ihe ndị a, Mbe gwakwara ụmụnnụnụ so ya n'ije ahụ na ọ ka mma ka ha jụọ Chineke onye o nyer eihe oriri ndị ahụ. Ha ekwere. Mbe wee jụọ Chineke ka ọ gwa ha onye o nyere ihe oriri na ihe ọṅụṅụ ndị ahụ. Chukwu wee za ha na ọ bụ: "Ụnụ niile" ka o nyere ihe ndị ahụ. Nke a pụtara na ọ bụ ha niile bịara ka o nyere. Mana Mbe gwara ụmụnnụnụ na ọ bụ naanị ya ka Chukwu nyere ihe oriri ndị ahụ n'ihi na aha ya bụ "Ụnụniile" dịka o siri gwa ha na mbụ.

Ka ha kwadoro ụla, Mbe chọkwara nnukwu akpa wee fọjuo ihe oriri na ihe ọṅụṅụndị ahụ. o nyeghi ụmụnnụnụ buy a gaa ma otu. Nke a mere ka iwe wee ụmụnnụnụ nke ukwu. Ha wee bupụta Mbe, hapụ ya n'etiti ikuku fesasịa lọtawa n'ụwa. Mbe wee si n'elu, ya na akpa nri ya adaa n'ala. Ahụ ya niile wee kụrichaa mkpirisi n'ihi na o nweghi nku nke ọna-efe efe. Ọ bụ ya mere okpokoro azụ Mbe ji enwe nkawasị wee ruo taa.

Ihe ozizi ifo a bụ na mmadụ inwe anyaukwu adịghị mma.

**NNWALE ONWE 3**

1. Kọwaa ajọ omume ole sere elu n'akụkọ mbe na ụmụ nnụnụ.
2. Kedụ etu akụkọ a siri gosipụta anyaukwu?

**ii. Mmegide**

Isiokwu ụfọdụ ifo Igbo nwere ike bụrụ mmegide. Ifo isiokwu ya bụ mmegide bụ ụdị ifo na-egosi na imegide mmadụ adịghi mma. E ji ụdị ifo dị otu a akuzina imegide mmadụ adịghị mma. N'otutu akuko ifo Igbo, mmegide n'agbaelu; okachasi n'ifo ndị ahụ a na-enwe nwa enwe nne. Ọmụmaatụ "Nne Mo, Nwaanyị Ọma" *(Ọmalịnze),* "Nwa a na-emegbu emegbu" *(Nza na Obu)* na "Nwa Ogbenye Na Ibe Ya Na Egwu Edere" (*Ọka Mgba*).

**Nwa Ogbenye Na Ibe Ya Na Egwu Edere**

Otu mgbe, ọ dị otu nwa agbọghọ. O nweghi nne na nna n'ihi na ha nwụrụ mgbe ọ bụ nwa nta. Nwa agbọghọ a mara mma nke ukwu, topụtakwa mmadụ. O nwere akọ na uche nweekwa ezi agwa.

Ndị ala ya na ndị ikwu ya hụrụ ya iro n'ihi na ụmụ ha ndị nwaanyị adịtụghịka ya n'agwa. Ha adịghị ekwe ka ezi di bịara ya. Ọ dịghị onye na-emezi nwa agbọghọ a, dịghịkwanụ onye na-enye ya nri. Ọ na-enweta ihe ọna-eri site n'ire akụ o tiri n'ahịa.

Ụfọdụ ndị mmadụ na-eche na ya na ndị mmụọna-akpa. Anaghị ha ekwe ka ya na ụmụ ha na-akpakọta. Mgbe dum obi ọjọọ na-eme nwa nta ahụ. Ya ana-akpọ nne ya na nna ya n'isi n'isi, na-ebe akwa. Ma ọ dị otu ihe na-atọ ya obi ụtọ mgbe niile. Nke a bụ na ọ dịghị onye ọ na-arịọ arịrịọ nri n'ime ha. Ọ dịghịkwa onye ọ na-erosị iro.

Otu ụbọchị, otu eze ala ahụ nyere iwu na ya chọrọ ịlụ nwaanyị n'ala ahụ. Ọ bụ n'ụbọchị a ga-agba egwu edere ka ya ga-ahọrọ onye ya ga-alụ. Eze ahụ sịkwara ka a kpọpụtachaa ụmụ agbọghọ niile a mụrụ n'ala ahụ torurule ịlụ di. Ha niile ga-ezukọta n'ama ya n'ụbọchị edere ahụ ga-adị. Ndị ala ahụ niile akpawara ụmụ ha ngwa ha ga-eji n'ụbọchị ahụ. Ọ dịghị onye mere ihe ọbụla n'ebe nwa agbọghọ ahụ nọ.

Izu e yiri egwu edere eruo. Onye ọbụla nọnị jimachara ada ya, na ụmụ ndinyom ya ndị ọzọ. Ha duuru ha gawa n'ebe eze ala ahụ bi ka ọ họrọ nwa agbọghọ nke masịrị ya n'ime ha. Mgbe ha gawara, ha hapụrụ ịkpọrọ nwa agbọghọ a na-enweghị nne na nna. Ihe ha mere jọrọ njọ bụ ihe ha mere n'ụzọ. Ha pụtara n'ụzọ hụ ebe ijere nọ. Ha gwara ijere ndị a ka ha gbochie nwa agbọghọ ahụ ịgafeta ma ọ chọwa iso ha. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ ahụ ekweghi ịlaghachi azụ ka ha tagbuo ya. Ijere kweere ime ihe ha gwara ya. Mgbe ha pụtara n'ụzọ hụ ebe Mkpu nọ, ha gwara ya ka o gbochie nwa nta nwaanyị ahụ igafe. Ha gwakwara iyi dịchiri ụzọ ka o rie nwa agbọghọ ahụ ma ọ chọwa ịgafe. Mbu na iyi ahụ kweere ime otu a.

Mgbe nwa agbọghọ ahụhụrụ na ndị ala ahụ agawala ghara ya, ya ebewe akwa, kpọwa nne ya na nna ya n'isi n'isi. Mgbe ọ nọtụchara, ya ehipụ

anya mmiri, jikere, gawa egwu edere. Ihe ọ gaje ime n’ebe ahụ a na-agba egwu edere bụ ilere anya. Ọ bụghị na ọ ga-eso ndị ọzọ agba egwu. Mgbe ọ pụrụ n’ụzọ, ya ahụ ebe ijere nọchiri ụzọ. Ekweghi ha ya ka ọ gafee. Ya tụọike ya ka ya gafee, ha atakịsịa eze ha mewe mkpọtụ. Ya amalite gụwa nkwa a:

Ijere agala emele mụ efee oo,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Amụ na ibe m yiri edere,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Ibe agawa ghara m ooo,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma
Nne ka m nwe,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Nna ka m nwe,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.

Ma ọ gụchaala nkwa akwa ahụ, oke ebere emee ijere ahụ. Ha kpọrọ ya, lamachaa ya isi, tee ya uri, bee ya mbọ ụkwụna mbọ aka. Ha nyere ya ohere ka ọ gafeee, dupụkwa ya n’ụzọ, sị ya gawanụ. Ị hụ ya, ya amachaa nnọọ mma. Uri ahụ hiri ya nke ọma.

Nwa agbọghọ ahụ erute ebe mkpu dịchiri ụzọ, sị ka ya gafee. Mkpu ekweghi. Akịka esi na mkpu pụsịa bịa ịta ya. Ya agụọrọ ha nkwa ọ gụụrụ ijere. Mkpu meere ya ahụ izizi, kpọrọ ya, rachaa ya ahụ. Ahụ ya ga na-acha ezigbo ụcha. Mkpu chọkwara yam ma, site n’inye ya akpụ otube. Ha dupụkwara ya n’ụzọ sị ya gawanị.

Mgbe ọ pụtara n’iyi ukwu ahụ dịchiri ụzọ, o nweghi ike ịgafe. Mmiri ruchichara ebe niile, na-egbu amụma. Nwa agbọghọ ahụ achọwa ka ọ gafee, iyi ahụ ekweghi. Kama ọ chọrọ iri ya. Ya agụọrọ iyi ahụ nkwa ọ guụrụ ijere na mkpu. Iyi ahụ meere ya ebere. O sere, kpọrọ ya, ghụmachaa ya ahụ, were amụma ya tinye ya n’ahụ. O kewara ka nwa agbọghọ ahụ gafee.

Nwa agbọghọ ahụ gaara rite ebe ibe ya nọ na-agba egwu edere. Ụtọ egwu ahụ ekweghi ya guzo n’akụkụ lewe naanị anya. O sooro ibe ya gbawa egwu. Mma ọ mara na nkwa ọma ọ na-agba mere ka anya mmadụ niile ndị bịara egwu tụgharịa n’ebe ọ nọ. Ha ajawa ya mma, jụrịtawa onwe ha onye ọ bụ. Ọ dịghị onye matara ya. Ndị ala ya amataghịkwa ya.

Egwu ahu na-adasi ike. Onye eze ala ahụ pụtara n’ama legahrị anya, hụ ebe ụmụ agbọghọ na-ete egwu na ebe ndị bịara ile anya nọ. Anya erughi ya ala nke ọma ịmata onye kacha mma n’ime ụmụ agbọghọna-ete egwu. Ihe kpatara o ji pụtadi apụta bụ ka ọha mmaduhụ ya anya, mara na ihe o

kwuru bụ eziokwu. Mgbe ọ laghachiri azụ n’ụlọ ya, ndị bịara egwu amara na ọ gaje imezu nkwa o kwere.

Mgbe chi ehihie gbara, onye eze edupụozi ka otu n’ime ndị ohu ya ga lee onye o chere kacha mma n’ime ụmụ agbọghọ ndị a na-ete egwu edere. Ohu ya apụta n’ama lee ụmụ agbọghọ a anya n’otu n’otu. Ọ raghi ahụ ya ahụ nwa agbọghọ ahụ na-enweghi nne na nna ka ọ na-ezegburi egwu edere ya. Nwa agbọghọ a mara ya mma nke ukwu. Ya asị na ọ kacha ndị niile na-agba egwu mma. Ọ gbaara laa, ga kọọrọ nna ya ukwu Eze ihe ọ hụrụ. Ọ gụrụ nkwa a, sị:

Isi a lara ala,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Uri e dere ede,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Akpụ otube mkpu,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Amụma iyi,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.

Mgbe Eze nụrụ nke a, ya asị, “Ọ dịghị ihe m na-agaghi anụ na ndụ m a. Ntị m anụla ihe ọ na-anụbeghị mbụ. Ndịị onye ọbụ ka ịkwe nwunye m mma? Onye ọbụ bụkwa mmadụ e kere eke?”

Ya achụpụ nwa ozi ya ahụ, dupụ onye ozi ya ọzọ ka ọ gaa, lee nwa agbọghọ wa a sị na ọ ka nwunye ya Igwe mma. Onye ozi nke abuọ a lọtara, gwa ya ihe onye mbụ gwara ya. Nke a ejughi ya afọ. o dupụchara ndị ozi ya niile. Ha agaa, lọtakwa, gwakwa ya otu ihe ahụ.

N’ikpeazụ, ya edupụ nkịta ụkwụ ya ka oga lee ma ihe ndị ozi ya kwuru ma ọ bụ eziokwu. Ọ maara na nkịta ụkwụya agaghị aghara ya ụgha. Nkịta ụkwụya aga, gbara ọsọ lọta, gbọwa ụja, “ghom, ghom, ghom, ghom, ghom,” izi ya na ihe e kwuru bụ eziokwu. Nkịta ụkwụ ya gbara rute n’ebe ọ nọ, ya aghara pụwa ezi, na-ele anya ma ọ ga-esoro ya gawa n’ama ebe egwu na-ada. Nke a mere ka Eze bilie n’ebe ọ nọ, jiri ụkwụ ya pụọ n’ama ịhụ onye ọbụ ka nwunye ya Igwe mma. Mgbe ọ hụrụ nwa agbọghọ ahụ a na-ekwu okwu ya, ya ekwere n’ihe ndị ozi ya na nkịta ụkwụ ya kwuru.

Eze nyere iwu ka a kwụsị egwu. Ndị na-akụ egwu na ndị na-ete ete akwụsị lewe ya na ndịozi ya anya n’ihu. Ọ kpọrọ nwa agbọghọ ahụ, sị ya pụta n’etiti ọha. Nwa agbọghọ ahụ amara jijiji pụta. O chere na Eze na-aga inye ya ntaramahụhụ n’ihi otu o si bịa n’egwu edere ahụ. O chekwara na ndị ala ya gbara ya ama. Eze ala ahụ jụrụ ya onye ọ bụ na ebe o si bịa. Ya akọọrọ ya. Ọ bụ mgbe ahụka ndị ikwu ya na ibe ya ndị ala ya matara onye ọbụ.

Eze agwa ndị mmadụ niile nọ n'ebe ahụ, sị,
"Ọ bụ nwa agbọghọ a na-enweghi nne na nna ka m ga-alụ."
Mgbe o kwusịrị nke a, ụzụ tụrụ. Nke a zipụtara na ọchịchọ Eze masịrị ndị niile bịara egwu edere. Eze kpọọrọ nwa agbọghọ ahụlaa n'ụlọ ya. Ụfọdụ n'ime ndị bịara egwu na ndị ala nwa agbọghọ ahụ, ndị jimachara ụmụ ha nwaanyị weere mgbarụ ihu laa.

Akụkọ gosipụtara mmegide na anyaukwu n'ebe nwaagbọghọ a na-enweghị nne na nna nọ. Ma n'ikpaazụ, na-agbanyeghi mmegide na anyaukwu ndị a, nwagbọghọbịa mechara bụrụ ya ka Eze lụrụ. Akụkụ a na-akụzi n'anyaukwu na mmegide adighi mma tinyekwara na na-agbanyeghị mmeso ọjọọ ndị mmadụ n'ebe ibe ha nọ, n'ihe mmadụ ga-abụ ka ọ ga-abụ.

**iii. Okeọchịchọ**

Ụfọdụ isiokwu na-agbado ụkwụ n'okeọchịchọ. E ji ụdị ifo ndi isiokwuha bu okeọchịchọ-akuzi na inwe okeọchịchọ adịghị mma. Ọtụtụ oge, Mbe bụ agwa na-akacha agba elu n'ụdị ifo ndị a. Ọmụmaatụ akụkọ "Mbe naỤmụ Atanị" nke dị na *Nza na Obu*.

**iv. Akpọmasị**

Isiokwu ifo nwekwaraike bụrụ ịkpọasị. Ihemmụta na-esi n'ụdị ifo dị otu apụta bụ n'ịkpọasị adịghị mma. Ọmụmaatụ: akụkọ "Nwunye nke a Kpọrọ Asị" nke dị n' *Ọmalịnze na* "Nwa Ogbenye na ibe ya na Egwu Edere" nke di n'*Ọka Mgba*gosipụtachara isiokwu ịkpọasị. Akụkọ "Ọdụ nà Ọnà" nke dị n'*Ọmalinze*bụkwa ọmụmaatụ ifo isiokwu ya bụ ịkpọasị.

**Ọdụ nà Ọnà**

Otu nwoke na nwunye ya kpebiri mgbe ha na-amalite ịhụ di na nwunye na ọ bụrụ na ada ha amakarịsịa ọgbọ ya dum na mma, na ha ga-ahụ ya n'anya nke ukwu na-azụtakwara ya ihe ejiji karịa ha niile. N'ihi nke a mgbe nwaanyị ahụ dịrị ime mbụ gaa n'ụlọ nwa dibịa o wee gbaara ya n'afa na ọ ga-abụ nwata nwaanyị, obi tọrọya ụtọ nke ukwu. Kwa ụbọchị nwaanyị ahụ agaa n'okwu chi ya na-ekpere ya ka o nyere ya aka ka nwata nwaanyị ahụ a sịrị na ya ga-amụ makarịsịa ọgbo ya na mma. dị ka ihe uwa si adị mgbe a mụpụtara ya, ọ jọgburu onwe ya na njọ. Ihe a wee wute ha nke ukwu. Ha were n'ihi nke a kpọ ya asị site na mgbe ọ dị ntakịrị. Ma ọkpụkpụsiri nwata ahụ ike site n'ụbọchị ụtụtụ. ha wee gụọ ya aha kpọọ ya Ọdụ. N'oge ọ tụụrụ ime nke abụọ ọ mụrụ nwata nwaanyị ọzọ mara mma otu ha chọrọ. Nwata nwaanyị a magburu onwe ya na mma. N'ihi ya ha gụru ya aha kpọọ ya Ọna.

Ka ha abụọ na-etopụta Ọdụ na-ajọwanye njọ ma na-esiwanyekwa ike ebe Ọna na amawanye mma. Ị hụ Ọna ahụ ya ana-agbu marịmarị ka enyo, eze ya ana-enwu gbaa ka ụgbala. Agịrị isi ya tokwara ogologo, e

metụya aka ọ dị yọrịị ka ajị oke. N'ihi ya nne ya na nna ya hụrụ ya n'anya nke ukwu, kpọkwa Ọdụ tọrọ ya asị nke ukwu. Nke a mere ka ha na-ezi Ọdụ ozi dum. Ọ bụ ya nwe ịza ezi na ụlọ, ite ụlọ, ichute mmiri, ịkpata nkụ, isi nri na ije ozi niile ndiọzọ dịịrị ụmụ ada n'ụlọ. Ọna wee ghọọ ori nri agụta ọkụ. Naanị ihe ọna-eme bụ igwugharị egwu na ịpụgharị n'ụlọ ụmụntakịrịndị ọzọ.

Ihe a na-eme Ọdụ wee na-ewute ya nke ukwu. Mgbe ọbụla o sisịara nri bupụta wee hụ otu Ọna si amagara ka eze nwaanyị were na-eri ya, obi ana-agbawa ya. N'ihi ya o were obi na-eche ihe ya ga-eme ka ịhụju anya a wee kwụsị kpamkpam. Otu ụbọchị ndị mụrụ ha gawara ahịa, ndị mmụọ mepụụrụ ya ụkpala nsị. Mgbe ọ chọrọ ichu mmiri, Ọna sịrị na ya ga-eso ya gaa ịmara ebe mmiri ahụ dị ka ya wee sachaa akpụkpọ ahụ ya nke ọma tutu ya amalite igwuri egwu mana Ọdụ gbara nkịtị buru ite ya na-aga na mmiri n'ike n'ike. Ọna wee tụrụ mwomwo ọsọ na-eso ya n'azụ nwayọ nwayọ.

Mgbe ha ruru na mmiri ahụ, ka Ọna guzoro n'akụkụ mmiri na-asa ahụ, Ọdụ na-eleghari anya n'ihu na n'azụ. Mgbe ọ hụruna o nweghionye obụla nọ nso n'ebe ahụ, o were ike ya niile kwakpuo Ọna n'ogbu mmiri, sị ya. 'Apụ n'anwụ, nọrọ n'ebe ahụ ka i rigbuo onwe gị na nri chi gịna aka gị siri! Anụ ọhịa nwụru anwụ'. Mmiri ahụwee buru Ọna soro ọgba mmiri gbadaa n'ude ngwọ. N'ebe ahụ, mmụọ nwe mmiri ahụ kpọọro ya baa n'ime ogbu mmiri ebe ha bi. N'ebe ahụ ọ tụrụ ya ahịhịa ọgwụ n'anya o wee chefuo na ya bụ mmadu sorozie ụmụ mmụọ na-enwere obi aṅụrị. Tutu Ọdụ eburu ite mmiri ya laruo ụlọ ndị mụrụ ha alatalariahịa na-achọzi Ọna ka ha nye ya ihe ha zụtaara ya n'ahịa.

N'uhuruchi, mgbe nna ha huruna Ọna anataghị, ọ kpọzuru ụmụnna ya dum, ha mụrụ ọwa chọwa ya n'ụlọ ndị mmadu niile ebe ha maara na ọ na-aba ma ha ahụghị ya. Ihe a wee gbaa onye ọbụla gharịị. E mesịa a gaa n'ụlọ eze gwa ya na Ọna na-efu efu. Eze wee gwa ọma ekwe ya ka ọ maa ekwe na a chọrọ ka ụmụ okorobịa dum zuo n'ụtụtụ echi ya. N'ụtụtụ mgbe ha zukọtara, ha malitere ịwapịa ọhịa dum dị n'ala ahụ ka a mara ma a ga-ahụ ozu ya n'ọhịa ma na ọ dịghiihe a hụru. N'ikpe azụ e were ya na Ọna efumiela. Ma ihe a ekweghindị mụruya tachie ma ọlị. N'ihi ya mgbe izu anọ gasịrị ma a hụghị isi ya, nna ya kwadoro gawa Arọchukwu ịga jụ Chukwu Abịama ihe mere obere ada ya nwaanyị bụ Ọna.

Mgbe o rutere na Chukwu, ọ gwara ya na ọbụ ya na nwunye ya mere ihe Ọna jiri fuo; na ha gbara mbọ ịga Chineke n'ihu site n'ịkpọ ada ha o buru ụzọ zitere ha asị na ịgba mbọ iwepụ ya n'ọnọdụ o tinyere ya. Ọ gwara ya na ọ bụ iwe ihe a ha mere ka Chineke jiri mee ka Ọna fuo. Ọ gwakwara ya na ọ bụrụ na ha chọrọ ịhụ Ọna anya ọzọ na ha ga-eburu ụzọ nyeghachi ada ha ọnọdụ diịrị ya; na ọ bụrụ na ha emesịa nke a ha

ewere otu agbọghọ ewu, otu nnekwu ọkụkọ, ji asaa na ọjị asaa gaa na mmiri ala ha chuọrọ mmụọ nwe mmiri ahụ aja ka o wee hapụrụ ha Ọna. Ka ọ lọtara kọsịa ihe a ọ dịghị onye kwenyere na e nwere ike ịhụ Ọna anya ọzọ. Ma ka o sila dị ha kpebiri na ha ga-achụ aja ma ikpe mazie ndị mmụọ. N'ihi nke a ha gbara mbọ zụkọtara Ọdụ ihe ejiji dum ha zụụrụ Ọna mmaji mmaji, gbakwa mbọ hụ ya n'anya na-emekwa ka obi na-adị ya mma. Mgbe nke a gasịrị ha gara na mmiri ahụ chuọ aja a gwara ha. ka e mesịrị ihe ndị a ọ dịghi ihe a hụrụ, ndị mmadụ wee wepụ obi ha n'iche echiche banyere Ọna, n'ihi na ha sịrị na o fumiela.

Ka o sina-adị, mgbe ha chụsịrị aja ahụ Ọna nọrọ n'ala mmụọ ebe ọnọ n'ime ogbu mmiri cheta nne ya na nna ya. Ịlaghachi azụ malitere mgbe ahụ gụwa ya agụụ. N'uhuruchi ọbụla ọ na-apụta n'akụkụ mmiri ahuka ọ mara ma o nwere onye ọ ga-ahụ ka o zie ya ozi ọ ga-eziri ya ndị mụrụ ya, mana ọ dịghị onye ọ na-ahụ n'ihi na ndị mmadụ adịghị eru n'akụkụ ahụ. N'otu uhuruchi, mgbe ọ pụtakwara ọzọ, ka ọ hụrụ otu diochi na-ete ngwọ n'ebe dị anya o weliri olu ya kpọkuo ya sị:

| | |
|---|---|
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Kèlee Nnē kèlee Nnà o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Ekèlèkwọ̀là Ọdụ tōrọ Ọna o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Ọdụ tōrọ Ọna ègbuwo Ọna o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |

Mgbe diochi ahụ nụrụ ihe a chọọ onye na-akpọ ya ma ọ hụghị ya, ibubo nwụrụ ya n'ahụ, egwu tụkwara ya. O wee mee ngwa ngwa rịdata lawa n'ụlọ ya na-eche isi ihe a ọ nụrụ. N'echi ya mgbe ọ na-etekwa ngwọ ya, ọ nụkwara ka olu ahụ na-akpọukwa ya ọzọ sị:

| | |
|---|---|
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Kèlee Nnē kèlee Nnà o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Ekèlèkwọ̀là Ọdụ tōrọ Ọna o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Ọdụ tōrọ Ọna ègbuwo Ọna o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |

Mgbe o lupụrụ anya n'ebe olu ahụ si abịa, hụ Ọna, Ọna hụkwa ya, Ọ na jiri ọsọ makpuo n'ime mmiri. Nke a mere ka ahụ mawa diochi ahụ ririri n'ebe ọ nọ n'elu ngwọ. O wee mee ngwa rịdata lawa n'ụlọ ya. Ọ dịghị onye ọbụla ọ kọọrọ ihe ọ hụrụ n'ihi na a sịrị na diochi adịghị akọsịrị mmadụ ihe ọ hụrụ n'elu nkwụ. N'ụbọchị nke atọ, mgbe o rịgotakwara ọzọ n'elu ngwọ ya, ọ hụzịrị Ọna nke ọma, marakwa onye ọ bụ mgbe ọ na-akpọkwa ya sị:

| | |
|---|---|
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Diochi o, Diochi o, Diochi o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |
| Kèlee Nnē kèlee Nnà o | *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o* |

Ekèlèkwọ̀là Ọdụ tọ̄rọ Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Ọdụ tọ̄rọ Ọna ègbuwo Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*

Ugbua egwu ọbụla atụzịghị ya, kama o tachitere obi ya were nwayọ tesịa ngwọ ya lawa n'udo. Mgbe ọ laruru ụlọ ọ kpọrọ nna Ọna, gwa ya na ọ ga-eso ya gaa ite ngwọ n'echi ya ka o soro ya hụ ihe ya hụrụ, nụkwa ihe ya nụrụ. Ihe a ọ gwara ya lotaara ya ihe a gwara ya n'Arọchukwu. N'echi ya mgbe ọ pụtara n'ụlọ diochi ahụ n'oge ọ gwara ya, ọ chịnyere ya otu agbụ nkwụ ya, gwa ya na ọ bụrụ na ha eruo n'ebe ahụ, ka ọ rịgoro n'otu ngwọ, gee ntị nke ọma, legharịkwa anya nke ọma ma ọ bụrụ na ọ dị ihe ọ nụrụ. Mgbe ha rịgọtara n'elu ngwọ, Ọna pụtakwara tikuo diochi ahụ ọzọ sị:

Diochi o, Diochi o, Diochi o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Diochi o, Diochi o, Diochi o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Kèlee Nnē kèlee Nnà o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Ekèlèkwọ̀là Ọdụ tọ̄rọ Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Ọdụ tọ̄rọ Ọna ègbuwo Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*

Mgbe ha laruru ụlọ nna ya kpọro ụmụnna ya kọọrọ ha ihe ya nụrụ na ihe ya hụrụ. Ha wee kpebie na ha ga-ejide ya n'echi ya kpọlatakwa ya n'ụlọ ya. N'ihi nke a ụmụ okorobịa asaa gara n'akụkụ mmiri ahụ n'ehihie echi ya, kwụọ akwara, ghasịa ya akịrịkọ ji zookwa onwe ha n'akụkụ ọhịa wee ruo n'uhuruchi mgbe diochi ahụ bịara ite ngwọ ya. Mgbe ọ rịgotakwara n'elu ngwọ ahụ Ọna pụtakwara na-akpọku ya sị:

Diochi o, Diochi o, Diochi o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Diochi o, Diochi o, Diochi o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Kèlee Nnē kèlee Nnà o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Ekèlèkwọ̀là Ọdụ tọ̄rọ Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*
Ọdụ tọ̄rọ Ọna ègbuwo Ọna o *Ìyòlo, Iyōlo Ọnā o*

Mgbe ọ kpọkusịrị ya lee anya hụ ụmụ okorobịa asaa ji ọsọ eru ya ahụ ọ chọro ịgbaba n'ime mmiri mana ụdọ akwara ahụ ha kwụụrụ ya mara ya jidekwa ya. Ha wee ruo ya ahụ were akwara na akịrịkọ ji kee ya agbụ were ọsọ buru ya gbalaga. Ka ha larụrụ ụlọ a tọpụru ya agbụ. Otu nwa dibịa siri ike bịakwara tụọ ya ahịhịa ọgwụ n'anya, o wee chefuo ala mmụọ kpamkpam. Site n'ụbochị ahụ e nyere ya ọnọdụ dịirị ya nyekwa Ọdụ nke ya. Ọna malitekwara ije ozi dịịrị ya n'ezi na ụlọ. Ezemokwu ọbụla adịkwaghị n'etiti ha ọzọ ma ọlị. Udo laghachikwara n'ezi na ụlọ ahụ.

Ihe Mmụta: Akụkọ a na-akụziri anyị na o kwesịghị ka nwata ọbụla na-akparị onye tọrọ ya. O gosịkwara echiche ndị Igbo bụ na o kwesịrị ka nne na nna ọbụla na-akpachapụrụ ụmụ niile Chineke ziteere ha anya, ka

ọ gharakwa inwe nke ha kpọrọ asị iche ma ọ bụ nke ha hụrụ n’anya iche, kama ka ha na-enye nke ọbụla n’ime ha ọnọdụ ruru ya.

Akụkọ “Ọdụ nà Ọnà” nke di n’elu bu ezigbo ọmụmaatụ ifo na-egosi na mmadụ ịkpọ mmadụ ibe ya asị adịghị mma ma ncha; na-agbanyeghị otu onye ahụ dị maọbụ ihe onye ahụ mere. Ọmụmaatụ ọzọ bụ akụkọ “Nwa Ogbenye na Ibe ya na Egwu Edere” nke dị n’*Oka Mgba*

**NNWALE ONWE 4**

Kọwaa ajọ omume ole ị chọpụtara n’akụkọ a nakwa etu akụkọ a siri gosipụta ihe na-eme n’ụwa taa

**Nwa Ogbenye Na Ibe Ya Na Egwu Edere**

Otu mgbe, ọ dị otu nwa agbọghọ. O nweghị nne na nna n’ihi na ha nwụrụ mgbe ọ bụ nwa nta. Nwa agbọghọ a mara mma nke ukwu, topụtakwa mmadụ. O nwere akọ na uche nweekwa ezi agwa.

Ndị ala ya na ndị ikwu ya hụrụ ya iro n’ihi na ụmụ ha ndị nwaanyị adịtụghịka ya n’agwa. Ha adịghị ekwe ka ezi di bịara ya. Ọ dịghị onye na-emezi nwa agbọghọ a, ọ dịghịkwanị onye na-enye ya nri. Ọ na-enweta ihe ọna-eri site n’ire akụ o tiri n’ahịa.

Ụfọdụ ndị mmadụ na-eche na ya na ndị mmụọna-akpa. Anaghị ha ekwe ka ya na ụmụ ha na-akpakọta. Mgbe dum obi ọjọọ na-eme nwa nta ahụ. Ya ana-akpọ nne ya na nna ya n’isi n’isi, na-ebe akwa. Ma ọ dị otu ihe na-atọ ya obi ụtọ mgbe niile. Nke a bụ na ọ dịghị onye ọ na-arịọ arịrịọ nri n’ime ha. Ọ dịghịkwa onye ọ na-erosị iro.

Otu ụbọchị, otu eze ala ahụ nyere iwu na ya chọrọ ịlụ nwaanyị n’ala ahụ. Ọ bụ n’ụbọchị a ga-agba egwu edere ka ya ga-ahọrọ onye ya ga-alụ. Eze ahụ sịkwara ka a kpọpụtachaa ụmụ agbọghọ niile a mụrụ n’ala ahụ torurule ịlụ di. Ha niile ga-ezukọta n’ama ya n’ụbọchị edere ahụ ga-adị. Ndị ala haụ niile akpawara ụmụ ha ngwa ha ga-eji n’ụbọchị ahụ. Ọ dịghị onye mere ihe ọbụla n’ebe nwa agbọghọ ahụ nọ.

Izu e yiri egwu edere eruo. Onye ọbụla nọnị jimachara ada ya, na ụmụ ndinyom ya ndị ọzọ. Ha duuru ha gawa n’ebe eze ala ahụ bi ka ọ họrọ nwa agbọghọ nke masịrị ya n’ime ha. Mgbe ha gawara, ha hapụrụ ịkpọrọ nwa agbọghọ a na-enweghị nne na nna. Ihe ha mere jọrọ njọ bụ ihe ha mere n’ụzọ. Ha pụtara n’ụzọ hụ ebe ijere nọ. Ha gwara ijere ndị a ka ha gbochie nwa agbọghọ ahụ ịgafeta ma ọ chọwa iso ha. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ ahụ ekweghi ịlaghachi azụ ka ha tagbuo ya. Ijere kweere ime ihe ha gwara ya. Mgbe ha pụtara n’ụzọ hụ ebe Mkpu nọ, ha gwara ya ka o gbochie nwa nta nwaanyị ahụ igafe. Ha gwakwara iyi dịchiri ụzọ ka o rie nwa agbọghọ ahụ ma ọ chọwa ịgafe. Mbu na iyi ahụ kweere ime otu a.

Mgbe nwa agbọghọ ahụhụrụ na ndị ala ahụ agawala ghara ya, ya ebewe akwa, kowanne ya na nna ya n'isi n'isi. Mgbe ọ nọtụchara, ya ehipụ anya mmiri, jikere, gawa egwu edere. Ihe ọ gaje ime n'ebe ahụ a na-agba egwu edere bụ ilere anya. Ọ bụghị na ọ ga-eso ndị ọzọ agba egwu. Mgbe ọ pụrụ n'ụzọ, ya ahụ ebe ijere nọchiri ụzọ. Ekweghi ha ya ka ọ gafee. Ya tụọike ya ka ya gafee, ha atakịsịa eze ha mewe mkpọtụ. Ya amalite gụwa nkwa a:

Ijere agala emele mụ efee oo,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Amụ na ibe m yiri edere,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Ibe agawa ghara m ooo,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma
Nne ka m nwe,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.
Nna ka m nwe,
Iwe mma, iwe mmarịma, iwe mma.

Ma ọ gụchaala nkwa akwa ahụ, oke ebere emee ijere ahụ. Ha kpọọrọ ya, lamachaa ya isi, dee ya uri, bee ya mbọ ụkwụna mbọ aka. Ha nyere ya ohere ka ọ gafeee, dupụkwa ya n'ụzọ, sị ya gawanị. Ị hụ ya, ya amachaa nnọọ mma. Uri ahụ hiri ya nke ọma.

Nwa agbọghọ ahụ erute ebe mkpu dịchiri ụzọ, sị ka ya gafee. Mkpu ekweghi. Akịka esi na mkpu pụsịa bịa ịta ya. Ya agụọrọ ha nkwa ọ gụụrụ ijere. Mkpu meere ya ahụ izizi, kpọrọ ya, rachaa ya ahụ. Ahụ ya ga na-acha ezigbo ụcha. Mkpu chọkwara yamma, site n'inye ya akpụ otube. Ha dupụkwara ya n'ụzọ sị ya gawanị.

Mgbe ọ pụtara n'iyi ukwu ahụ dịchiri ụzọ, o nweghi ike ịgafe. Mmiri ruchichara ebe niile, na-egbu amụma. Nwa agbọghọ ahụ achọwa ka ọ gafee, iyi ahụ ekweghi. Kama ọ chọrọ iri ya. Ya agụọrọ iyi ahụ nkwa ọ guụrụ ijere na mkpu. Iyi ahụ meere ya ebere. O sere, kpọrọ ya, ghụmachaa ya ahụ, were amụma ya tinye ya n'ahụ. O kewara ka nwa agbọghọ ahụ gafee.

Nwa agbọghọ ahụ gaara rite ebe ibe ya nọ na-agba egwu edere. Ụtọ egwu ahụ ekweghi ya guzo n'akụkụ lewe naanị anya. O sooro ibe ya gbawa egwu. Mma ọ mara na nkwa ọma ọ na-agba mere ka anya mmadụ niile ndị bịara egwu tụgharịa n'ebe ọ nọ. Ha ajawa ya mma, jụrịtawa onwe ha onye ọ bụ. Ọ dịghị onye matara ya. Ndị ala ya amataghịkwa ya.

Egwu ahu na-adasi ike. Onye eze ala ahụ pụtara n'ama legahrị anya, hụ ebe ụmụ agbọghọ na-ete egwu na ebe ndị bịara ile anya nọ. Anya erughi

ya ala nke ọma ịmata onye kacha mma n’ime ụmụ agbọghọna-ete egwu. Ihe kpatara o ji pụtadi apụta bụ ka ọha mmaduhụ ya anya, mara na ihe o kwuru bụ eziokwu. Mgbe ọ laghachiri azụ n’ụlọ ya, ndị bịara egwu amara na ọ gaje imezu nkwa o kwere.

Mgbe chi ehihie gbara, onye eze edupụozi ka otu n’ime ndị ohu ya ga lee onye o chere kacha mma n’ime ụmụ agbọghọ ndị a na-ete egwu edere. Ohu ya apụta n’ama lee ụmụ agbọghọ a anya n’otu n’otu. Ọ raghi ahụ ya ahụ nwa agbọghọ ahụ na-enweghi nne na nna ka ọ na-ezegburi egwu edere ya. Nwa agbọghọ a mara yam ma nke ukwu. Ya asị na ọ kacha ndị niile na-agba egwu mma. Ọ gbaara laa, ga kọọrọ nna ya ukwu Eze ihe ọ hụrụ. Ọ gụrunkwa a, sị:

Isi a lara ala,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Uri e dere ede,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Akpụ otube mkpu,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.
Amụma iyi,
Kara, kara Igwe mma, kara kara.

Mgbe Eze nụrụ nke a, ya asị, “Ọ dịghị ihe m na-agaghi anụ na ndụ m a. Ntị m anụla ihe ọ na-anụbeghị mbụ. Ndịị onye ọbụ ka ịkwe nwunye m mma? Onye ọbụ bụkwa mmadụ e kere eke?”

Ya achụpụ nwa ozi ya ahụ, dupụ onye ozi ya ọzọ ka ọ gaa, lee nwa agbọghọa a sị na ọ ka nwunye ya Igwe mma. Onye ozi nke abuọ a lọtara, gwa ya ihe onye mbụ gwara ya. Nke a ejughi ya afọ. o dupụchara ndị ozi ya niile. Ha agaa, lọtakwa, gwakwa ya otu ihe ahụ.

N’ikpeazụ, ya edupụ nkịta ụkwụ ya ka oga lee ma ihe ndị ozi ya kwuru maọbụ eziokwu. Ọ maara na nkịta ụkụya agaghị aghara ya ụgha. Nkịta ụkwụya aga, gbara ọsọ lọta, gbọwa ụja, “ghom, ghom, ghom, ghom, ghom,” izi ya na ihe e kwuru bụ eziokwu. Nkịta ụkwụya gbara rute n’ebe ọ nọ, ya aghara pụwa ezi, na-ele anya ma ọ ga-esoro ya gawa n’ama ebe egwu na-ada. Nke a mere ka Eze bilie n’ebe ọ nọ, jiri ụkwụ ya pụọ n’ama ịhụ onye ọbụ ka nwunye ya Igwe mma. Mgbe ọ hụrụ nwa agbọghọ ahụ a na-ekwu okwu ya, ya ekwere n’ihe ndị ozi ya na nkịta ụkwụ ya kwuru.

Eze nyere iwu ka a kwụsị egwu. Ndị na-akụ egwu na ndị na-ete ete akwụsị lewe ya na ndịozi ya anya n’ihu. Ọ kpọrọ nwa agbọghọ ahụ, sị ya pụta n’etiti ọha. Nwa agbọghọ ahụ amara jijiji pụta. O chere na Eze na-aga inye ya ntaramahụhụ n’ihi otu o si bịa n’egwu edere ahụ. O chekwara na ndị ala ya gbara ya ama. Eze ala ahụ jụrụ ya onye ọ bụ na

ebe o si bịa. Ya akọọrọ ya. Ọ bụ mgbe ahụ ka ndị ikwu ya na ibe ya ndị ala ya matara onye ọbụ.
Eze agwa ndị mmadụ niile nọ n'ebe ahụ, sị,
"Ọ bụ nwa agbọghọ a na-enweghi nne na nna ka m ga-alụ."

Mgbe o kwusịrị nke a, ụzụ tụrụ. Nke a zipụtara na ọchịchọ Eze masịrị ndị niile bịara egwu edere. Eze kpọọrọ nwa agbọghọ ahụlaa n'ụlọ ya. Ụfọdụ n'ime ndị bịara egwu na ndị ala nwa agbọghọ ahụ, ndị jimachara ụmụ ha nwaanyị weere mgbarụ ihu laa.

**v. Ime Nganga**

Ụfọdụ isiokwu akụkọ ifo Igbo gbadoro ụkwụ na ime nganga adịghị mma. E ji ụdị ifo dị otu a akuziri ụmụaka ọghọm dị na mmadụ ime nganga. Ọmụmaatụ: akụkọ "Nwa Agbọghọ na-agba Ịhọ di" nke di n'*Ọka Mgba*. Ifo kọrọ maka otu nwata nwagbọghọ mara mma nke ukwuu; nne na nna ya bịa nwekwa ego n'ebe ọdị ukwuu. N'ihi nke a, ọ chọghị ilu ụmụokrobia ndị na-abịara ya di wee ruo oge otu nwa okoro mmụọ gara nakọta ndị mmadụ akụkụ ahụ dị icheiche wee bịa ịlụ ya. Oge ọ lụchara ya, ọ kpọrọ ya laa ala ụmụmmụọ. N'ebe ahụ ka ha chọrọ i gbu ya; ma ewepụ na otu egbe fedatara wee buru ya bulara ndị nwe ya. E ji ụdị ifo dị otu a, a kuziri ụmụaka ka ha zeere ime nganga maọbụ ịgba nhọ di n'ihi mpako.

Ọmụmaatụ ọzọ bụ akụkọ "Nza na Obu" nke dị na *Ọka Mgba*.

**Nza na Obu**

Otu mgbe Nza na Obu na-eme enyi. Enyi ha siri ike. Obu chere sị na ọ bụ oke nriju afọ ya mere o ji buo ibu. N'ihi nke a, ọ na-akpa nganga sị na ya ka Nza eriju afọ, kakwa ya ike. O jikwara ibu ya elu ọnụ.

Mgbe Nza nụrụ ya, iwe were ya. Ya akpọ Obu sị ya, "Ọ dị ihe anyị ga-eme ịmata onye ka ibe ya ike." Obu asị ya, "Kwuo ihe ọ bụ. Ejikeere m ejikere." Nza asị ya, "Ebe ị sị na ị ka m ndụ adị, kakwa m ike, anyị ga-anọ aguọ abalị asatọ. Ọ dịghị onye ga-eri nri ọbụla dịgịkwanụ onye ga-apụ ezi. Anyị ga-amara onye agụọ ga-egbu."

Obu ekwe n'ihe o kwuru. Ha abụọ aba ụlọ agụọ, tụchie ụzọ ụlọ ha. Nza nwere ebe o gwupuru ọnụ n'ụlọ ya. Ọ bụ ebe ka o si apụ gaa kpara nri. Ma Obu amaghi ihe na-aga.

Kwa isi ụtụtụ, Nza apụọ ga chọro nri ọ ga-eri. Ya lọta, ya apụta n'ọnụ ụzọ ụlọ ya na-agụrụ Obu egwu a:
Nza na Obu
N . . . ye, n . . . ye,
Nza na Obu,
N . . . ye, n . . . ye,

Ha mara iwu,
N . . . ye, n . . . ye,
Onye erile,
N . . . ye, n . . . ye,
Onye atụla.
N . . . ye, n . . . ye,
A kwụ ntị bọọ.
N . . . ye, n . . . ye,
Tịtịbọ tịbọọ.
N . . . ye, n . . . ye,
A ṅaa ntị pee.

Mgbe ọ gụchara, Obu abawa mba, sị, “Nza bụ ohu m, ohu m, ohu m.” Kwa ụbọchị, Nza apụọ, gaa rijuo afọ ya. Agụọ ana-egbu Obu. Ọ bụ otu a ka ha megidere tutu o ruo abalị asaa. N’abalị nke asatọ ya, Obu anwụịrị agụọ.

Nza esi n’ụlọ ya pụta, gaa n’ụlọ Obu, kpọ ya oku. Ọ nụghị mkpatụ ya. ya aba n’ime ụlọ, hụ Obu ka ọ nwụrụla. Ya apụta, laghachi n’ụlọ ya.

**NNWALE ONWE 5**

1. Kedụ ihe ị chere gburu Obu n’akụkọ a?
2. Kedụ ihe ọjọọ mmadụ kwesịrị ịzere sere elu n’akụkọ Nza na Obu

**vi. Asịrị**

Isi okwu ifo Igbo nwekwara ike gbado ụkwụ n’asịrị na nsogbu ọ na-ebute. Ọmụmaatụ: akụkọ “Oke Enwe Kwi-iI Yangoo” nke dị n’*Ọmalịnze*na “Ụmụ Agbọghọ Ibe M” nke dịkwa n’otu akwụkwọ ahụ.

**Ụmụ agbọghọ ibe m**

Mgbe akụkọ a malitere, e nwere ụmụ agbọghọ atọ, ndịha atọbụ ọyị. Ebe a hụrụ otu ka a na-ahụkwa ndị ọzọ. Ha atọ topụrụ etopụ, makwaa mma, mana ihe rụrụ otu n’ime ha bụ na ọ na-agbaka asịrị. Okwu anaghị anọdọ ya n’ire.

Ihenke a na-eme ndị ọyị ya ihere. N’ihi nke a, ha anaghị achọ ka o soro ha na-eje ihe ọbụla. Ha jewe nkụ, ha na-agba mbọ ka ha gbanahụ ya. Ha jewe igbutere ewu nri, otu ihe ahụ. Ha chuwe mmiri, ha na ọsọ ana-eme. Mana onye a na-eze amaghị na a na-eze ya.

O ruo otu ụbọchị, ụmụ agbọghọ atọ a wee kwadowe ichu iyi. Ka ọgba asịrị hụrụ na ndị ozọ na-achọ ịgbanahụ ya, o buru ite, chezọọ ajụ gbasowe ha. Ka ha na-eje n’ụzọ, ka ọ na-asị asịrị na-aga; ma nke ọ hụrụ

ma nke ọ hụghị. Ihe nke a na-agbakasị ibe ya ahụ. Mana o nweghị ohere ile ha anya n'ihu.
Ka ha ruru na mmiri, ha saa ahụ. Mgbe ha kwadoro ibuli ite ha ka ọgba asịrị ji wee tie mkpu, sị na ya echezọọla ajụ ya. Ọ rịọrọ ndị ozọ ka ha chere ya, ka ya jee n'ọhịa kata ihe ya ga-eji mere ajụ. Ka o jewere, ndị otu ya mee ngwa ngwa, buru ite ha gbapụ ọzọ. Tupu ha apụọ, ha kpojuru okwute n'ime ite ya, kunye ya obere mmiri, o ju.

Ka nwata nwa agbọghọ ahụ pụtara, ọ nwaa ka ya maburu ite, mana o kweghịya. Ihe a riri ya ọnụ. ̣O bụkata ya, o kweghị. O wee kpọwa oku. Ọ na-akpọ sị onye ọbụla nọ nso bịa bo ya ite. Ka o kwukatara nke a, otu olu zaa ya. Olu a na-ada n'imi n'imi ka olu onye ihe mere n'imi. Olu ahụgwara ya sị na ya ga-abịa boya ite, mana ọ ga-ekwe nkwa na ọ gaghị akọ ihe ọ hụrụ ma e mechaa. Nwa agbọghọ ahụ kwere.

Ihe ahụ na-ekwu n'ime ọhịa were hihipụta. Egwu nwụrụ nwata nwa agbọghọ ahụ. Ọ mụchie anya mụghakwaa ka o doo ya anya na ya anaghị arọ nrọ. Ọ hụkwa ihe ahụ ọ hụrụ na mbụ. Ọ bụ nwa mmụọ mpekere isi. Ihe niile o nwere dị mpekere. O nwere otu anya, otu ntị, ọkara ọnụ, mpekere imi, otu aka, na otu ụkwụ.

Nwa mmụọ ahụ bịa wụfuò mmiri dị n'ite ya, chịpụta okwute niile dị ya, kujuoro ya mmiri n'ite bo ya. Ka ọ na-ala, ọ kpọrọ ya dọkwaa ya aka n anti ka ọ ghara ikwu ihe ọ hụrụ.

Nwata nwa agbọghọ buuru ite ya tipụ ọsọ. Ọ na-agba na-akpọ ụmụ agbọghọ ndị ọzọ ka ha chere ya. O ji nnukwu ọsọ wee jekwudo ha ka ha na-eru ụlọ nso. Ka ọhụrụ azụ ha anya, obido na-agụ na-ekwe sị:
Ụmụ agbọghọ ibe m

*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ụmụ agbọghọ ibe m
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ihe m hụ̀rụ̀ taàtà
Ị̀ mà nà ọ bụ̀ nwa mmū̀ọ
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Sọ otù ntị̀ kà o bù,
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ma anya bụ̀ sọ otù
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Imi pùrù yà èpu,
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Otù akā nà ụkwụ,
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Bụ̀ ihe o jì àga ijè
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*

Ka ụmụ agbọghọ nụrụ nke a, ha gbara n'aka, sị na ha anụghị ihe o kwuru. Ha jiri ọsọ gbabachaa na be ha. Ọgba asịrị wee gbalaruo na be nne ya. Ka ọ na-ezitụ ike, ọ na-akọ na-agụ na-ekwe, sị:

Ụmụnnē m gèe ntị̀
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ụmụ̀nnē m gèe ntị̀
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ihe m hụ̀rụ̀ taàtà
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ị̀ mà nà ọ bụ̀ nwa mmūọ
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Sọ̀ otù ntị ka o bù
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Ma anya bụ̀ sọ̀ otù
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Imi pùrù yà èpu,
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Otù akā na ụkwụ
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*
Bụ̀ ihe o jì àga ijè
*Kpirisi iyom iyom iyom kpirisi*

Nne nwata ahụ gbara n'aka. Ọ baara nwa ya mba ka o mechie ọnụ. Ọ dịghị onye chọrọ ịnụ akụkọ a, n'ihi na okwu banyere ndị mmụọ adịghị mfe.

Ka otu izu gara, otu ọmarịcha nwa okorobịa buuru mmanya bịa sị na ya ga-alụ nwata ahụ. Ka ọhụruya, ọ gbaga nara ya ite mmanya ahụ, sị na ọ bụ ya ga-alụ ya. Mana nne ya na nna ya ekweghi. Nkịta nọn'ụlọ na-agbọ sọ ụja. Mana nwata ahụ jụrụ ajụ. Ọ sị na nwoke ahụ alụghị ya, na o nweghị ihe ga-enwe isi. Ka a dọkatara okwu, nne ya na nna yakwere ka ihe wee dịka mma. o wee kwadowe ka ya je mara be di ya.

Mgbede wee ruo, ha abụọ bilie ije. Ha gara ịkpa asaa, na mmiri asaa, di ya sị ya chere ka ya bịa. Ọ baa n'ime ọhịa. Nwa agbọghọ ahụ chere. A nọkatakwa, otu ihe agafee. Chi abụrụla

'ọ bụ onye, ọ bụ onye',
ugbua, nke na anaghị ahụkwa ụzọ nke ọma.

Ka nwata ahụ chekatara, ọ hụrụ otu ihe na-abịakwute ya. Ihe ahụ na-akpọre akpọre. Nwa agbọghọ ahụ tie nnukwu mkpu. Ihe ahụ sị ya bịa ka ha laa, naya bụ di ya. Nwata ahụ tiwe sị na ya anaghị eso ya; na ọ bụghị ya bụ di ya, ya bụ ihe sokwaa ya sị ya na ọ bụ ya; na ya enyela ndị ọzọ

aka na ụkwụ ya nụtara ha. Ọ gwara ya sị na ọ bụrụ na ọ bịaghị, na ya ga-abịa buru ya eburu.

Nke a mere ka agbọghọ ahụ mawa jijiji. O bilie ngwa ngwa soro ya lawa. O teghị aka, ha rute na be ndị mmụọ. Mgbe ọ hụrụ mmụọ dị icheiche, egwu jisiri ya ike. Ndị mmụọ pụrụ sị ka ha gbaa izu. Ka ha gbasịrị izu, ha pụta kpọrọ ya kpọnye otu ohu nọ ebe ahụ, ka ọ kpụchapụ ya isi.

Nwata ahụ bidoro siwe ọnwụ, na-ajụ nwa ohu ihe ya mere e ji akpụcha ya isi. Mana ohu ahụ sị ya na o nweghị arụ o mebeghị. Ọ gwara ya, ka o jisie ike mechie ọnụ chee nwantịntị echiche. O kwukwaa sị ya na oge na-eru mgbe naanị ihe ọ ga-anụ n'ebe ọ nọ bụ mgbe anụ ya ga-na-asụ n'ite.

Egwu nwụụrụ ya, nwa ohu kpụchapụ ya isi. O kporo ntutu ya jee ka o jee lie n'ọhịa. Naanị nwata ahụ nọ. O chere echiche ngwa, ngwa. Ka nwa ohu pụrụ, o si ụzọ nke ọzọ gbaba n'ọhịa Ọ na-agba ọsọ ka ike ya ha ka ya gbanahụ ha. Mgbe nwa ohu lọghachitere azụ, ọ hụrụ na nwa agbọghọ ahụ agbapụla. O tiri mkpu. Ndị mmụọ zukọọ. Ka ha nụrụ ihe mere ha nupụ chụwa ya bụ nwata.

Onye gbapụrụ ọzọ eruwela n'ikpere mmiri ahụha gara mbụ, mgbe o nụrụ ka ụzụ na-atusoya n'azụ. Ozugbo ahụ, ọ mara na ọ bụ ndị mmụọ ahụ na-achụ ya. Ahụ bido mawa ya ririri. O lee anya, ọ maghị ka ya ga-esi gafee mmiri ahụ n'ihi na chi ejiela. Ka ọ na-eti kpụkpụkpụ na-achọ ihe ọ ga-eme, ọ hụrụ otu obere osisi kwụ n'akụkụ mmiri. Ọ rịgoro n'osisi ahụ rịọya ka o tolie elu.

Ndị mmụọ gbaara ọsọ ruo n'ikpere mmiri, lee anya aka nri na aka ekpe, ma ha ahụghị nwata ahụ. Ha chọgharia ya. Otu lere anya n'elu osisi wee hụ ya ka ọ nọ n'ọnụ ogologo osisi ahụ. O tiri mkpụ rụọ aka. Ndị ọzọ wee hụ ya.

Ka ha hụrụya, ha wee iwe n'ihi na anụha gara iri eri, na-achọ igbanahụ ha. Ha hụrụ na ha enweghị ike ịrị ya bụ osisi, dịka o si too ogo. Ha kpọrọ nnukwu ikuku ka o kutuo osisi a.

Nnukwu ikuku bido kuwe. O buje ya ebe a, o buru ya bujekwa n'ebe ọzọ. Egwu jidere nwata, o wee makụsie osisi ahụ ike. Ka nke a na-eme ikuku wee iwe wee kusiwe nnukwu ike. Oge na-aga, ikuku a na-eku.

Ka ọ na-eru n'ime abalị, ike gwụ osisi ahụ, mana ike agwụghị ikuku. O kusiri otu nnukwu ike, wee fopụosisi ahụ n'ukwu. Nke a tọrọ ndị mmụọ ụtọ nke ukwuu, ha kụwa aka. Nwata ahụ mụchiri anya na-echezi mgbe ọ ga-abụ.

Ka osisi fopụrụ n'ukwu, ikuku ahụna-ekusịrịrị ike maka na iwe ka na-ewe ya. Mgbe osisi na-ada ka ọ daruo ala, otu nnukwu ikuku kachasị ndị ozọ kuru, buru osisi ahụ tụfuo n'ofe mmiri nke ozọ.

Nke a mere ndị mmụọ tie mkpu n'ihi na ọ bụn'ala mmadụ ka ya bụ nwata dara. Agbọghọ ahụ amaghị ihe mere. O chekatazie ka a nwụrụ ya, wee mụghee anya. Ka ọ hụrụ na ọ bụ na ofe mmiri ka ọ dara, o bilie tikapụ ọsọ.

Ọ gbagidere ọsọ gbaruo na be nne ya wee daa n'ala, ndị be ha wee gbawa ya mmiri. Ka o tetara, ọ na-ele naanị n'anya. Ọnụ ekweghị ya akọ ihe ọ hụrụ. Bido ụbochị ahụ gawa ka o ji mara ihe. Ọ kwusirị ịgba asịrị n'ihi na ọ fọrọ ntakịrị ka asịrị rie isi ya.

**vii. Akpịrị/Ụsa**

Ụfọdụ ifo Igbo nwekwara ike nwee isiokwu ndị gbadoro ụkwụ na akpịrị maọbụ ụsa. Ụdị ifo a na-egosị na akpịrị maọbụ ụsa adịghị mma. E ji ụdị ifo dị otu a akuziri ụmụaka ka ha zere ụsa n'ihi onwere ike itinye ha na nsogbu maọbụ butere ha ọnwụ. Ọmụmaatụ: akụkọ "Eze rìrì ji àjà nke dị n'*Ọmalịnze*

**NNWALE ONWE 6**

1. Kọwaa ihe mmụta niile sere elu n'akụkọ ụmụagbọhọbịa ibe m
2. Kedụ omenala Igbo ndị pụtara ihe n'akụkọ a?

## 4.0 MMECHI

Na yunit a, elebara anya n'ụfọdụ isiokwu ndị a na-ahụta n'akụkọ ifo Igbo. Ebumnobi isiokwu ndị a bụ iji wee gosi ụmụaka ihe ndị ha kwesịrị ińomi na ihe ndị ha kwesịrịi zeere.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, emereme niile na-apụta ihe n'akụkọ ifo, ma ha dị mma ma ha dị njọ bụ maka iji kuzie ihe. N'ihi na ọbụrụgodu n'ifo gosipụtara akparam agwa ọjọọ n'ime ya, a ana-ewebatakwa akparamagwa ọma; debekọta ha abụọ ọnụ otu n'akụkụ nke ọzọ. N'ikpaazụ ihe ọma ga-emeriri ihe ọjọọ. Nke a bụ iji gosi ụmụaka na na-agbanyeghị na-enwerike ịhụta agwa ojọọ na-etiti mmekọrịta mmadụ na ibe ya; na ụmụaka kwesịrị ịhọrọ agwa ọma.

## 6.0 IHE OMUME

1. Isiokwu ifo ndị Igbo na ifo ndi n'ime ha bụ akụrụngwa na i zulite ụmụaka ibi ezi ndụ n'ọdịnihu.' Were ọmụmụaatụ akụkọ ifo ndị dabara adaba wee kọwaa nke a.
2. Were ọmụmaatụ dabara adaba kọwaa nkeọma ka anyaukwu si bụrụ otu n'ime isiokwu na-adi n'ifo Igbo.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C. B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, U.I. (2001). *Éké na Égwùrùgwù.* Ibadan: Heinemann Educational Books.

Nwadike, U.I. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature*). Onitsha: Africana Publishers Ltd.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

# YUNIT 2 URU IFO BARA

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
  3.1 Uru dị n’Ifo
    3.1.1 Uru akụkọ ifo bara na nzụlite ụmụaka
    3.1.2 Uru akụkọ ifo bara n’ebe agụmagụ dị
    3.1.3 Uru akụkọ ifo bara na ndụ ndị Igbo n’ozuzuoke
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo bara oke uru na ndụ ndị Igbo; ọkachasị na-ebe ụmụntakịrị nọ. Na yunit a, e kewara uru akụkọ ifo n’isi atọ. Ha bụ uru ọbara n’ebe ụmụaka nọ; uru ọbara n’ebe agụmagụ dị; na uru ọbara na ndụ ndị Igbo n’ozuzuoke. A ga-elebanye anya n’uru ndị a a na-enweta site n’akụkọ ifo n’ala Igbo n’otu n’otu.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit iheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- Kọwapụta ọtụtụ uru ndị a na-enweta site n’akụkọ ifo
- Were ọmụmaatụ dabara nkeọma we gosipụta uru ndị a
- Gosipụta otu akụkọ ifo si enye aka na igosipụta na na nkwalite nkwenye na omenala ndị Igbo

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Uru Akụkọ Ifo Bara

Dika e kwurula na mbụ, akụkọ ifo bara oke uru na ndụ ndị Igbo; nke na ọmụmụ ya ka na-agakwa n’ihu n’agbanyeghị ọtụtụ ihe ndị na-echere ya aka mgba n’oge ugbu a. Ihe ndị ahụ na-ebute okemmekpa ahụ n’ebe akụkọ ifo dị n’ala Igbo; a ga-eleba ihe ndi ahụ anya mgbe oge ya ruru n’ọmụmụ ihe a. e nwere ike iji akụkọ ifo tụnyere ụlọ ‘obi’ a na-enwe n’ala Igbo. ‘Obi’ bụ ebe nna nwe ụlọ na-anọ eme ihe dị ańaa dịmkpa na ngwuru ezi ya, dịka igba izu di ańaa maọbụ inabata ọbịa puruiche. N’agbenyeghị ụdị akụnaụba ndị ezinaụlọ ahụ nwere, anaghị akụkpọ ‘obi’ n’ihi mkpa ọdị na n’ihi ọnọdụ ya n’ezinaụlọ. Otu ahụ ka ọdị na-ebe

akụkọ ifo dị. Dịka otu ọkammuta Igbo bụ Asonye Ụba-Mgbemena (1985: 53) si kwuo, akụkọ ifo bụ akụkọ jupụtara n’amamihe. Ọ bụ n’ime akụkọ ifo ka a na-enweta ọtụtụ ihe gbasara ndị Igbo na omenala ha. Ihe ndị ahụ gụnyere nkwenye, omenala, akparamagwa, agwọmọgwụ, echiche ụwa, akpamike ndị bụ dike, enwemenwe, ọchịchọ na mmā ndị Igbo dị. Ụba-Mgbemena gakwara n’ihu kọwapụta na tupu agụmagụ na edemede sitere n’aka ndị ọcha, nke nyere aka ghasasịa omenala anyị atụbata ụkwụ na ndụ ndị Igbo, akụkọ ifo so n’ụzọ ndị Igbo si akụnye mkpụrụ ezi agwa na ndụ ụmụaka Igbo.

### 3.1.1 Uru Akụkọ Ifo Bara na Nzụlite Ụmụaka

Ndị akara buru n’uche wee na-efo ifo n’ala Igbo bụ ụmụaka. N’oge ndị Igbo malitere ebimndụ ha tupu edemede na ụlọmbipụta apụta; ndị Igbo nwere usoro ha si azụlite ụmụaka ha n’ibi ezigbo ndụ na ịkpa agwa ziri ezi. Ụzọ ha si eme nke a dịka a rụtụrụla aka bụ site n’agụmagụ ọdịnala/ọnụ ha. Otu n’ime agụmagụ ọdịnala/ọnụ ahụ bụ akụkọ ifo. Ọ bụ site n’akụkọ ifo ka esi akuziri ụmụaka usoro ebimndụ ndị Igbo; ụdị agwa a na-atụ anya n’aka ha na ha kwesiri inwe, nkwenye ha maọbụ ihe ndị ha na-asọ nsọ. N’ihi naakparamagwa agwa ndị dị n’akụkọ ifo bụ enyo eji ahụta ndụ ndị Igbo. Site n’akparamagwa agwa ndi ahu di n’akụkọifo, ndị Igbo na-esite n’ ime ha kuziere ụmụaka ime ihe ọma ma gbaara ihi ọjọọ ọsọ. Ọ bụ n’ihi ya ka eji enwe ihe mmụta site n’akụkọ ifo ọbụla. Ụmụaka na-esite n’ifo mụta ikwu eziokwu, ikpa ike, inwe nrubeisi, ịnwe obioma, ịnwe obi ebere, ịsọpụrụ ndị okenye, inyere mmadụ aka, na ịgba mbọ. Ha na-esikwa n’akụkọ ifo mụta izere ihe ọjọo ̣dị icheiche, dịka ịsị asị, izu ohi, igbu mmadụ, ịdị ume ngwu, ịlụ ọgụ, inupuisi na ndụmọdụ, dgz. Ọ bụrụgodu ifo e gosipụtara igbu mmadụ maọbụ ime ihe ọjọọ ndị ọzọ n’ikpeazu onye mere ihe ọjọọ na-enwatarịrị ntaramahụhụ etu a ga-enwetarịrị ntaramahụhụ dịrị ya.

Ọmụmaatụ ifo na-akuzi n’izu ohi adịghị mma bụ akụkọ “Nwanyị Zuuru ihe di ya na Imo” nke dị n’*Ọka Mgba.*

**NwanyịZuuru ihe di ya na Imo**
Otu nwoke lụrụ ọtụtụ ndinyom. Ọ hụrụ ha niile n’anya, na-emere ha ihe oma. Ọ na-elekọta ha anya nke ọma. Otu n’ime ha ka o jiri mee nwaanyị mma ya. Ọ bụ ya ka ọ na-emere ihe karịa. Ọ bụkwa ya ka ihe niile na-aka n’aka ma di yaweta ya. Otu ụbọchị, nwoke a gaje mba, gwa ndinom ya, sị, “Ọ dị anụ nkelu kwụ n’ọkụ n’ime ụlọ m. Ka onye ọbụla ghara i were ya rie, n’ihi na ọ bụ anụ na-ana ọgwụ.” Ma ọ gawala, nwaanyị mma di abaa n’ime ụlọ di ya, were anụ nkelu ahu rie. Ọ dịghọ onye hụrụ ya mgbe ọ mere ihe di otu a.Di ha alọta, baa n’ime ụlọ, chọọ anụ ahu. Ọ hụghị ya. Ya akpọkọta ndịnyom ya niile, jụọ ha one riri anụnkelu ahụ. Ọ dịghị onye n’ime ha kwetara na ọ bụ ya. Ya ezie ozi ka a kpọ ndị ikwu na ibe ndinyom ya. Ha niile ezukọta, na-ele anya ka a

gwa ha ihe mere. Nwoke ahụ agwa ha ihe mere n'ụlọ ya, sị ha, "Anyị niile ga-aga n'akụkụ Imo. Nwaanyị nọnị ga-agọrọ onwe ya agọ n'ihu Imo. Ọ bụrụna ọ daba n'ime Imo, ma Imo erighi ya, mụ na ụnụ amara na ọ bụghiya zuuru anu ahụ rie." Ha niile ekwere gaa n'akụkụ Imo. Mgbe ha rutere, nwaanyị nnekwu eburu ụzọ gọọ agọnke ya, guọ nkwa a, sị:

Oke Imo, oke Imo,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
Oke Imo ndị di m,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
M taakwa nkelu,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
Oke Imọ buru m gaa agba elu o,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
Oke Imo buru m gaa agba ala o,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
Ma ọ dịghị, ma ọ dịghị.
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.
Oke Imo bupụta m n'ụso ọhịa o,
Ebelibe, ebelibe nte, ebelibe.

Ya adaba n'ime Imo kpawuuu! Imo eburu ya laa elu, buru ya laa ala, tụpụta ya n'ụsọ ọhịa. Ndị ikwu ya na ibe ya agbawa egbe ha kpimmm! Ha akpọroya ṅụrụ ọṅụ laa.

Ndinyom niile nwoke a agọọ agọ nke ha, daa Imo. Imo erighi ha. Ndị ikwu ha na ibe ha aṅụrụ ọṅụ kpọrọ ha laa. Ya afọdụ nwaanyị mma di. Ya agoọ agọ nke ya, gụọ nkwa nke ya ụjọ ụjọ. ndị nọ ebe ahụ agbọgide ya, sị ya gụsie nkwa ya ike. Ye ekwe, bido gụsie nkwa ya ike, daba n'ime Imo kpawuuu! Imo eburu ya laa elu, buru ya laa ala, Imo atụ ya, tụ ya, tụ ya, zi ya elu, zi ya ala, minyọọ ya n'ime ya. Imo erie nwaanyị ahụ, buru ya laa. Ndị nwe ya ebere akwa laa.

E ji ụdị akụkọ a akuziri ụmụaka na izu ohi adịghị mma; n'ihi ya, ọ bụghị agwa a tụrụ anya na ha ga-eńomi. Maka na onye tinyere aka n'ụdị agwa a, ga-enweta ntaramahụhụ n'ikpeazụ. Ọzọkwa, akụkọ ifo na-enyere ụmụaka aka ịmụta akụkọ ala ha; ihe ndịha na-eri, ụdị ejiji ha na ihe ndịha na-asọ nsọ. N'otutu ifo a na-egosipụta ụfọdụ nri ndịIgbo. Ọmụmaatụ: "Mbe na Nduru" nke dị na *Mbediọgụ*.

**Mbe na Nduru**

O ruru otu mgbe, Mbe gwa nduru ka ha bụrụ enyi. Nduru wee kwere. N'echi ya, ha abụa gaa n'agịga-ọhịa wee mee ubi ebe ha kụrụ okpodudu na ede. Ma mgbe owuwe ihe ubi ruru, ha abụa wee gaa chịkọta ihe ahụ niile kee ya n'ọba. Ogologo arọ ahụ niile ha na-ewere okpodudu na-eri.

Ma mgbe ihe ahụ malitere ịgwụ n'ọba, Mbe wee were aghụghọ ka ha sisịrị nri, sị "Tupu onye ọ bụla erie ihe a anyị siri, ya buru ụzọ kpọọ aha ya." Nduru jụa Mbe ọ bụ n'ihi na ya na-asụ nsụ ka o jiri tie iwu a? Mbe kpọọ aha ya ozigbo, wee ribe nri. Nduru wee malite ịsị "Kpokpodudu, dukpo, ikpodu, kpodukpo, dudukpokpo." Mbe sị ya na ọ kpọtaghị ya. Ka ọ na-agba mbọ ịkpọta ya, Mbe erichapụ nri zararam, hichaa ọnụ.

O rue, oge ọzọ, ha sisịa nri Nduru wee sị Mbe, "Tupu onye ọbụla e rie ihe a anyị siri, ọ ga-ewere mmiri saa aka ya ma ọ gaghị ebi ya n'ala maọlị wee jee n'oche o ji nọdụ ala." Nduru gaa ngwa saa aka ya, fegote n'oche, nọdụ, malite iri ihe. Mbe wee jee ịsa aka; o wee welie anya na-ele enyi ya ka ọ na-eri nri n'ike n'ike. O were iwe saa asa ya; ma mgbe ọna-arịgoa, o biela aka ahụ n'ala n'ihi na ọbụ ya ka o ji aga ije. Otu a ka o mere ọtụtụ oge ma o nweghị ike. O were iwe dị ọkụ jee nọdụ ala na-akwa akwa; Nduru erichapụ nri ahụ wee na-achị ya ọchị. Ụgwọ na ụgwọ wee tanaa.

Akụkọ ifo a, kọwara na Mbe na Nduru mere ubi ebe ha kụrụ okpodudu na ede. Okpodudu na ede bu nri ndi Igo. Iwebata ha n'ifo bụ iji wee gosipụta ụdị nri ndị Igbo nwere.

Akụkọ ifo na-enyekwara ụmụaka aka ịghọta ihe a chọrọ ịkụzi n'ụzọ dị mfe. N'ihi na dika e kwururla, usoro akụkọ ifo na nhazi ya na-adị mfe; nke a na-enye aka iwepụ ihe ọgbagharịị nke oke ọmụmaatụ na-ebute. Ọmụmaatụ, ọ bụrụ na-achọrọ ikuziri ụmụaka n'ụzọ dị mfe na ọ dịghi mma ka mmadụ na-agbasịrị maọbụ bụrụ onye ga-abụ ihe ọbụla ọ hụrụ okwupụ, na-ajụghị ase ihe kptara ihe jiri dị otu ọ dị maọbụ wee mee; a ga-akọrọ ụmụaka ahụ ụdị ifo a na-esotenu: akuko "Oke enwe kwi-i yango" nke dị n'*Ọmalinze*.

**Oke enwe kwi-i yango**

O ruru otu mgbe ahụ, otu eze lụtara ụmụ nwaanyị ise. Ọ hụrụ anọ n'anya, kpọọ otu asị. Ọ naghị eghe ya ọnụ nke ọ na-enye ya nri. Nwaanyị a bi n'ụlọ dị n'azụ ụlọ. o dịghị onye na-ajụ maka ya. Sọ ya bi. Ọ mụtaghị nwa. Ọ dịghi onye chọrọ ka ya na nwaanyị a bụrụ ọyị n'ihi na egwu na-atụ ha na eze ga-ewe iwe. Nwaanyị a wee nọrọ n'ikpo mmadụ bụrụ ogbenye. N'ihi nke a, ya na ụmụ anụ ọhịa bụwa ọyị. N'ime ụmụ anụ ahụ ya na ha bụ ọyị, nke ọ hụkarịrị n'anya bụ otu enwe. Enwe a na-abịakwute ya na mgbede ha na-akparị ụka. Ha kparịchaa, enwe alawa. O nweghị onye maara na ya na enwe bụ ọyị n'ihi na o nweghị onye na-apụkwute ya.

O ruo otu mgbe, enwe ahụ wee bịa. Ihu atọghị ya ọchị ka o si atọ ya mbụ. Nwaanyị wee jụọ ya ihe na-eme ya. Enwe sị ya na o nweghị n'ihi na enwe ahụ achọghị ka nwaanyị ahụ mara ihe na-eme ya. Ka nwaanyị ahụ jụkatara ya, enwe wee gwa ya. Ọ sị ya na enwe niile nwere ọgbakọ

ha ga-anọ izu asaa. Na ha ga-eje ya n'ebe tere aka. Ọ sị ya na egwu na-atụ ya n'ihi na ọdụ ya toro ogologo makwaa mma nke ukwu.

Na mgbe ụmụ ibe ya hụrụ ya, ha ga-ebido mesowe ya anya ụfụ tagbuo ya, ka ha wee were ọdụ ya. Ka o kwuchara nke a, echiche jupụtara ha abụọ isi. Nwaanyị ahụ gwara ya sị ka ọ hapụ ije. Mana enwe ahụ gwara ya sị na ọ bụrụ na ya ụsụ na-esoghi anụ elu, na-esoghịkwa anụ ala.

Nwaanyị wee jụọ ya ihe a ga-eme. Enwe za sị na ọ bụ naanị otu ihe ka a ga-eme. Nke a bụ na ya ga-ewere ọdụ ya makwụnye nwaanyị n'ukwu. Ọ sị na ọdụ bụ ihe dị ndụ; na ọ dị mkpa na ọ na-eri nri. Nke a mere o ji dị mkpa na ya makwụnyere ya bụ ọdụ n'azụ nwaanyị ka ọ ga-abụ ọ na-eri nri, ọdụana-ewere nke ọ chọrọ.

Nke a mere ka nwa nwaanyị tie mkpu. Ọ sị enyi ya kedụ ka ya ga-esi buru ọdụ na-agagharị; na nke a ga-eme ka eze tụgbuo ya ka onye mere arụ. Ihe nke a nwaanyị kwuru bụ eziokwu. Mana nwaanyị maara na ọ bụrụ na enwe kachie ntị buru ọdụ jewe, na ibe ya ga-egbu ya. Ha anọkata n'echiche, nwaanyị wee sị na ya amarala ihe ha ga-eme. Ọ sị enwe na ya ga-ebu ọdụ ahụ. E ruo, ya akụkọ ya n'ukwu ya, makwasị ya akwa. Enwe ṅụrịa mana ọ rịọrọ nwaanyị ka ọ na-atụgharị ahụ. Nwaanyị kwere.

Enwe kedo ya ọdụ ya n'ukwu kelee ya pụwa. Nwaanyị ahụ wee buru ọdụdụ enwe. Ọ kpachapụrụ anya n'ihi na ọ maara ihe ga-eso nchọpụta. N'ụtụtụ, ọ na-ekedo ọdụ ahụ n'ukwu ya, were akwa makwasị ya. O ruo n'uchichi mgbe ọ ga-alaba ụra, ọ tọghepụ ọdụ ahụ, o megharịwa ahụ ka o si chọọ. Ihe niile na-aga nke ọma ruo izu atọ. Nwaanyị na-agụ ụbọchị na-eche mgbe enwe ga-alọta.

O ruo otu ụbọchị, nwaanyị teta n'ụra. Ahụ esighị ya ike. O kedobeghị ọdụ ahụ n'ihi na o nweghị onye na-abịa be ya. Nwaanyị wee bilie zawa ezi, ọdụ na-eku ume ndu, na-emegharị. Ka o ruru n'etiti ezi, mmadụkụọ aka n'ụzọ. Ume mapụrụ nwaayị. Ọ gbaba n'ụlọ ma tupu o nwee ike ikedo ọdụ ahụ, nwunye di ya nke ikpe azụ bata, sị na ọ bịara ịgụrụọkụ. Ụkwụ tọrọ nwaanyị n'ala maka na nwunye di ya ahụla ọdụ ahụ. Nwunye di ya lere anya tabie, lekwaa ọzọ ka ọ hụchaa ihe ya hụrụ nkeọma. Ọ gụrụ ọkụ jiri ọsọ pụọ. O jiiri mwemwe ọsọ gbajewe na be di ha. Ka o ruru, o tiwaa mkpu akwa. Nke a riri ezi ọnụ. Eze na-ajụ ya, na-arịọ ya ka ọ gwa ya ihe mere. Ma ihe nwaanyị ahụ na-ekwu bụ na ya ga-ala. Ọ sịrị na ya na enwe agaghị azọ di ya.

Okwu a gbara eze gharịị, eze wee wee iwe jụwa ya ụdị mkparị bụ nke a. Anasị eze kwuru sị na o nwere nwunye eze puru ọdụ, na ya jiri anya ya hụ. Eze tiri mkpu sị 'Ntị anụ emeela!' Anasị sị ya na ya hụrụ n'anya ya; na o nweghị onye kọọrọ ya, gwa eze na ọ bụrụ na ya bụ nwunye di ya

alaghị, na ya ga-ala. Ihe a riri eze ọnụ. Eze wee kụọ ekwe, sị na n'izu atọ na-abịa, na ndị nwunye ya dum ga-abịa n'obi ya. Mgbe ha bịara, na onye ọbụla ga-amapụ akwa ya, wee gbara ya egwu. Ọkwa nke a tụrụ onye ọbụla n'anya. Ha na-ajụ ihe kpatakwara nke a, wee nụ na a sị na o nwere otu n'ime ha bu ọdụ. Nke a ekweghịha nghọta, nke bụna ha nọ na-ele naanị n'anya. Nke eze kpọrọ asị nụrụ ekwe a kụrụ wee ghọta ozugbo ihe mere. Ọ maara na ọ bụ ya ka a na-achọ. Iru uju jupụtara ya obi, n'ihi na ọ maara na ọbụ ọnwụihere ka ọ ga-anwụ.

O ruo na mgbede, ọ na-ebe akwa na-akpọ enwe sị:
Oke ènwè kwi-i yango,
*Kwi-i yango*
Oke ènwè kwi-i yango,
*Kwi-i yango*
Ụmụ̀nne m̄ kàrà ijē egwu n'òbi
Anà m̀ ga-ejì ọdụ̀ jewe egwū
*Kwi-i yango*
Anà m̀ ga-eji ọdụ̀ jewe egwū
*Kwi-i yango*

O bechaa laba ụra. O ruo n'ụzọ ụtụtụ, nwunye di ya ahụ bịakwa ịgụrụ ọkụ, hụkwa ọdụ ahụ ọzọ. Ọ gụrụkwa ọkụ gbapụ. Ụbọchị na-aga, nwaanyị ana-ebe akwa na-ata ahụ. Nwaanyị ahụ tachara ahụ. Ma kwa mgbede, ọ na-akpọ enwe. Ka ọ fọrọ otu izu, ọ kpọsikwaa ya ike sị:

Oke ènwè kwi-i yango,
*Kwi-i yango*
Oke ènwè kwi-i yango,
*Kwi-i yango*
Ụmụ̀nne m̄ kàrà ijē egwu n'òbi
*Kwi-i yango*
Anà m̀ ga-ejì ọdụ̀ jewe egwū
*Kwi-i yango*
Anà m̀ ga-eji ọdụ̀ jewe egwū
*Kwi-i yango*
Ọ kpọchaa ya, baa n'ụlọ

Ọ nụka otu ihe mara cham, cham, wee bata. Ọ bụrụ enwe enyi ya! Nwaanyị ahụ bilie gbawa egwu, gbawa egwu. Ewe jụrụ ya ihe ọ na-ebere akwa o ji taa ahụ. Nwaanyị gwara enwe ihe nwunye di ya mere. Nke a were enwe iwe nke ukwu n'ihi na ọ bụ mgbe e ji lụta ya bụ nwaanyị ka eze ji malite mesiwe nwaanyị a ike.

O weere otu obejiri nye ya, gwa nwaanyị sị ya, ụtụtụ ụbochị a ga-agba egwu, ya hụọ ji tụọ ya mmanụ dewe, werekwa ji ọzọ hụọ dewe iche. O ruo mgbe nwunye di ya batara, ya were nke ọ tụrụ mmanụ nye ya, were

nke ọzọ rie. Ọ gwara ya sị ka ọ ghara iso nwunye di ya rie nke a tụrụ mmanụ. Nwanyị kwere ya. O ruo ụbochị a kara egwu, nwaanyị biliri hụọ ji kpachaa, tụo ya mmanụ. Ji nke a na-ama na-akpọ bughubughu. Ọ hụkwara ji ọzọ dewe. Ọ tụghị ya mmanụ.

E meghị eme, anasị eze gbabata ka ọ mara ma ọdụ ahụ adịkwa. Ọ bata hụ ya. Ọ bịa ka ọ gụrụ ọkụ, nwunye di ya sị ya nọrọ ala ka ha taa ọjị ụtụtụ. o kwe. Nwunye di ya were butuo ji nke a tụrụ mmanụ dọwara ya. Akpịrị dọwa nwaanyị ahụ adọ. Mkpọrọ asị wee sị ya riwe. Ọ dakwasị ji richapụ n'ihi na ọ bụ onye akpịrị. o rikatara kpọọ nwunye di ya ka ọ bịa rie, mana ọ sịrị ya riwe, na ya achọghị nke a tụrụ mmanụ. Nwanyị jide ji richapụ. O richaa rachaa aka, were eju gụrụ ọkụ. Ka ọ pụrụ n'ụzọ, ọ dị ya ka o nwere ihe na-eso ya. O wee lee anya n'azụ, ume mapụ ya. O lekwaa ọzọ hụkwa ihe ọ hụrụ. Ọ gbara ọzọ gbalaa na be ya. O megide nwụdo ọdụ ahụ dọwa ya aka, ma ọdụ ahụ nọsiri ike. Ọsụsọ wee zuo ya ahụ.

Ozugbo nwunye di ya lara, ụkwụ dị nwaanyị ahụ a kpọrọ asị mfe. O lee anya, ọ hụkwaghị ọdụ ahụ. O wee pụta kwewe ukwe, gụwa egwu. Oge a kara okwu na-eru, ọ saa ahụ tee ude mara akwa. O ruo mgbe ekwe kwuru, o bilie buru oche pụwa n'obi eze. Ka ndị mmadụ hụrụ ya, ebere mere ha n'ihi na ha anụla na ọ bụ ya bu ọdụ. A malite tiwe egwu. E bido na-ele ha ka a mara onye bu ọdụ. E bidoro n'isi nwaanyị. Onye e lere, ọ gbara egwu pụwa.

E ruo na mkpọrọmasị, oke egwu dị. Ndị mmadụ chere, na-atụ anya ihe ha ga-ahụ. Ka e lechara ya, o nweghị ihe a hụrụ. Nke a tụrụ onye ọbụla n'anya. Ha na-ekwu na-ajụ onye bu ọdụ. Mgbe ọ fọrọ ka e lee anasị eze, ọ sị na ebe ndịbu ọdụ ebukwaghị ọdụ, ka a gbasaa. Mana eze jụrụ ajụ. Ọ sịrị na onye ọbụla ga-agba ọtọ dịka ya si kwuo. E mee elu mee ala, eze jụ. Anansị bịa, e were lee ya. Ozugbo e metụrụ akwa ya aka, ogologo ọdụ pụta. Mmadụ niile tie mkpụ. Ọsọ kwojiri. Onye hụ, ọ kpọọ ibe ya.

Eze chụpụrụ anasị ya, sị ya bakwuru enwe n'ọbịa. Ọ kpọrọ nke ahụ ọ kpọburu asị, ọ bụrụezigbo nwunye ya. Bido ụbochị ahụ gawa, nwaanyị ahụ enwekwaghi nsogbu ọzọ. Nwunye di ya bara ọhịa malite ibi ka anụ ọhịa.

Ihe nke a kụziri anyị bụ, ka anyị ghara ịdị na-agba asịrị.

Na ngwụsị akụkọ a, e wepụtara ihe nkuzi dị n'ime ya, nke bu "…ka anyị ghara ịdị na-agba asịrị". Ma asigodu na-emeghi nke a, akụkọ gara sịrịrị werere ebe ihe mmụta dị n'ime ya gbakwara elu; nke na nwata ọbụla gechara ya ga-aghọta n'ihe nkuzi dị n'ime ya bụ mkpa ọ dị mmadụ izeere asịrị.

Akụkọ ifo na-enyekwara ụmụaka aka ka ha mụta ige ntị nke ọma n'ihe onyemaobu ndị ọzọ na-ekwu ma nweekwa ike itinye ọnụ mgbe o ruuru ha ikwu okwu. N'ihi na dịka akụkọ na-aga n'ihu ụmụaka na-anọdu nwayọọ gee ntị n'akụkọ Ọkọọ na-akọrọ ha. Ọ bụrụ na Ọkọakụkọ akọcha, ọ ga-ajụ ajụjụ; nke na nwata ọbụla egeghị ntị agaghị enweike ịzalite ajụjọ ndị a ga-ajụ.

N'aka nke ọzọ, mgbe ụmụaka gbakọtara ịnụ akụkọ ifo, ha na-amụta ezi mmekọrịta kwesịrị ịdị n'etiti mmadụ na ibe ya. N'ihi a na-emekari akụkọ ifo oge ọnwa na-eti; n'oge dị otu a ụmụaka si n'ezinaụlọ dị icheiche na-agbakọta n'ebe ha na-anọ akọ akụkọ ifo. Dịka nke a na-eme ụmụaka na-amụta inagide akparamagwa ụmụaka ibe ha. Ha na-amụtakwa ikwanyere ibe ha ugwu na nsọpụrụ na ime ihe n'usoro. N'ihi na ịza ajụjụ na-abu̩otu onye zachaa, ibe ya aza.

**NNWALE ONWE 1**

1. Were akụkọ ifo abụọ masịrị gị kọwaa nkeọma uru ifo bara n'ebe ụmụaka nọ.
2. Were ọmụmaatụ dabara adaba kọwapụta ụzọ e nwere ike isi we were akụkọ ifo nwogharịa ndụ nwatakịrị bụ onye anyaukwu.

## 3.1.2 Uru Akụkọ Ifo Bara n'Ebe Agụmagụ Dị

Ọ bụghịnaanị n'ebe ụmụaka nọ ka ifobara uru, ifo bara uru n'ebe agụmagụ dị. Akụkọ ifo bụ mmalite agụmagụ ederede. E nwere ike ịkpọ ya ide agụmagụ ederede, n'ihi n'ọtụtụ ndị ode agụmagụ na-agbado ukwụ na ya ma sitekwa na ya na-enweta akụrụ ngwa ha ji ede agụmagụ ha. Ọ bụrụ na ị gụọ *Things Fall Apart*, ị ga-ahụ ebe Achebe webatara akụkọ ifo Igbo iji wee mee ka edemede kwudosie ike nakwa iji wee kwagide agụmagụ ya. Etu a ka ọ dịkwa n'*Ala Bingo* D.N. Achara dere (Chọpụta ọmụmatụ ndị ọzọ).

Akụkọ ifo na-eme ka ụmụaka nwee mmasị n'ebe agụmagụ dị mgbe ha tolitere. Nke a bụ mmalite agụmagụ ọdịnala. Ọ bụrụ na ụmụaka amalite na nwata na-esonye n'agụmagụ (ifo), oge ha tolitere; ọ ga-enyere ha aka inwe mmasị n'ebe agụmagụ dị, maọbụ nke ọnụ maọbụ nke ederede. N'ihi na agadi nwaanyị anaghị aka nka n'egwu ọma agba; anaghịkwanụ amụ aka ekpe na nka.

**NNWALE ONWE 2**

1. Were ọmụmaatụ dabara adaba site n'akụkọ ifo ndị i jiri mụọ ihe tulee uru akụkọ ifo ifo bara n'ebe agụmagụ.

### 3.1.3 Uru Akụkọ Ifo Bara Na Ndụ Ndị Igbo n'Ozuzuoke

E wepụ uru ifo bara n'ebe ụmụaka na n'ebe agụmagụ ederede dị; ifo bakwara uru na ndụ ndị Igbo n'ozuzuoke. Ifo na-enye aka iji kọwaa ihe ụfọdụ na-eme n'eluụwa bụ ihe ndi anyị na-enweghị ike itinye n'akụkọ nkịtị. Ọmụmaatụ bụ "Etu Ọnwụ si bịa n'ụwa" nke dị n'*Ọmalinze*. Ọnwụ bụ ihe mmadụ enweghị ike ịkọwa maka ya n'ihi ya ndị Igbo ji ụdị akụkọ ifo a akọwara ụmụaka otu ọnwụ siri bata n'ụwa. Ifo a kọwara otu Mbe siri wee buru Nkịta ụzọ wee ruo bee Chukwu, wee gwa ya na ọnwụ ga adị n'ụwa. Ebe ndị mmadụ chọrọ ka ọnwụ ghara ịdị n'ụwa. Ụdị ifo dị otu a na-enye aka ibelata mmgbagwoju anya, ọkachasị n'ebe ụmụaka nọ. N'ihi na ụmụaka bụ ndị na-ajụ ajụjụ banyere ihe ọbụla gbagojuru ha anya.

Akụkọ ifo so n'ụdị agụmagụ nke ma onye maara akwụkwọ ma onye na-amaghị nwere ike ịnụ, ghọta ma kọọkwa. N'ihi na ọ bụ ọnụ ka e ji akọ ya; emebeghị ya ka a na-ede ya; n'ihi na-edeghị ya ede, onye ọbụla nwere ike ịnọdụ ala gere ya, mụta ihe n'ime ya ma nwekwaike kọọrọ ya onye ọzọ.

Tupu enwegasịa ihe ndị dị icheiche ndị mmadụ ji akpa onwe ha obiọma na ebe nlereanya dịgasị icheiche e nwegasịrị n'ụwa taa; ndị Igbo nwere ụzọ ndị ha si anọrị oge, eme onwe ha obiọma ma wee na-achụkwa ọbara mgbalielu. Otu n'ime ụzọ ha si wee na-eme nke bụ site n'akụkọ ifo. Akụkọ ifo na-eme ka ndị mmadụ na-enwe obiọma ma na-enwekwa afọojuju. E ji ya ebelata nchekasị na nsogbu juru n'ụwa.

N'ikpeazụ, akụkọ ifo na-enye aka, (ọkachasị n'ebe ụmụaka nọ) ịmụta omenala dị iche iche. N'ihi n'ihe mejupụtara ọtụtụ akụkọ ifo bụ omenala na nkwenye ndị Igbo.Akụkọ ifo na-enyekwara ụmụaka aka ịmụta ịsụ Igbo; n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji akọ akụkọ ifo ndị ahụ.

## 4.0 MMECHI

Na mmechi akụkọ ifo bara oke uru na ndụ ndị Igbo, ọkachasị n'ebe ụmụaka nọ. Enwere ike ịsị n'akụkọ ifo bụ enyo eji ahụta ndụ ndị Igbo. N'ihi nke a, o kwesịrị ka agbasịa mbọ ike ịhụ na ọ ga na-aga n'ihu.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchikọta, agụmagụ Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. O ḅụ site n'agụmagụ ha ka ha si ezipụta nkwenye ha, omenala ha, usoro ebimndu ha na ahụmiihe ụwa ha. Akụkụ ifo bụ otu n'ime agụmagụ ọnụ ndị Igbo nwere. Tupu ndi ocha abịa, n'usoro ebimndụ ndị Igbo, malite n'ogenwatakịrị ọbụla tolitere isonyere ndị ọzọ na-egwuregwu, ọna-abụ n'oge mgbede, oge ọnwa na-eti na umuaka na-agbakota, oge ha lụchara

ọrụ ụbọchị, wee gwurie egwu ma kpaa kwa onwe ha obi oma. Akụkọ ifo so n'ihe ha na-eme n'oge dị otu ahụ. Site n'ige akụkọ ifo, ụmụaka na-esite na nwata ha mara ụdịihe a na-achọ n'aka ha, ma mụtakwa usoro ewumewu, ahụmihe, omenala, nkwenye, na okpukperechi ndị obodo ha; tinyekwara ihe ndị ha na-asọ nsọ maọbụ ihe ndị ha na-akpọ arụ. Ụmụaka na-esite n'akụkọ ifo mụta maka ọrụaka dị icheiche na ihe ndị mmadụnwere ike ime ziri ezi iji wee nyere ndụ aka ma gbanahụkwa mpụ.

## 6.0 IHE OMUME

1. Akụkọ ifo Igbo yiri ugegbe eji ahụta ndụ ndị nwee ha. Tụlee nke
2. Akụkọ ifo nwere ọrụ dị mkpa na ịgbazi omume na akparamagwa ụmụaka. Nyochaa nke a site akwụkwọ akụkọ ndị i jiri wee mụọ ihe.
3. Were ọmụmaatụ ndị dabara adaba gosipụta otu akụkọ ifo siri bụrụ ngawọrụ n'igbaziri nwata aka n'ụdị ọrụ dịgasị icheiche o nwere ike isi n'ime ha họrọ ihe ọ ga-eji nyere ndụ aka oge otolitere.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann.

Anyachebelu, A. L. (2017). Ọnọdụ Akụkọ Ifo N'Oge Ugbu a. *Igede Igbo: A Journal of Igbo Studies*. Vol. 3 (1), 100-112.

Anyachebelu, A. L. (2016). Retrieving the Pearls of the Past: An Adaptation of Igbo` Folk-Narrative Strategies into Video Film. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*. Vol. 1, (1). 170-190.

Anyachebelu, A. L. (2019). Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. A Ph.D Thesis, University of Lagos.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales*. Ibadan: Oxford University Press.

Ikwubuzo, Iwu (2008). Igbo Oral Literature and the Igbo Youths Today: What Literary Legacy for Posterity in I. Ikwubuzo, C. Ohiri-Aniche & C. Nnabuihe (Eds.) *Udezuluigbo: A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu*. Lagos: Green Olive Publishers, 39-56.

Ikwubuzo, Iwu (2012). Enculturating the Diasporic Igbo Child. *Ọfọ Journal of Transatlantic Studies,* Vol. 2, No.1. Bowling Green

Ohio: Africana Studies Program, Bowling Green State University.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nnyigide, M. N. and Okoye A. N. (2016). "Igbo Folktales and Igbo Youths Development: The Need for Revitalization of Igbo Folktales". In *Mgbakoigba,Journal of African Studies.* Vol. 6 (1).

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1973). *Nza na Obu.*Onitsha: University Publishing Co.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

Onuko, T. and Ezeuko, R. (2012). "Making Children and Youth Literature Available in the Nigerian Society through Translation" in Anedo, A. O. and Udemmadu, T. N. (Eds). *The Ideal Man: A Festschrift in Honour of Professor Obed MuojekwuAnizoba*. Awka: Apple Books.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

## YUNIT 3 IHE NDỊ NA-ECHERE AKỤKỌ IFO AKA MGBA N'OGE UGBU A

**NDỊNA**

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Ihe ndi na-echere akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a
3.2 Mmetụta Ọbịbịa Ndị Ọcha
3.3 Ihe mkpasasị anya dị n'oge ugbu a
3.4 Ọnọdụ enweghị ọhere n'akụkụ ndị nne na nna
3.5 Ejighịasụsụ na omenala Igbo kporo ihe.
3.6 Keduzi ka a ga-esi kwoo onye ukwu wara?
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Ihe kpatara nke a bụ maka na ọ bụ site na ya ka mmadụ, ọkachasị ụmụaka, na-agbaso wee mụta omume na akparamagwa enweghị ngwakọrịta nke omenala ndị mba ọzọ. N'ihi na n'oge ahụ, ha amaghị ka esi ede maọbụ agụ, tinyekwara na e nwebeghi ụlọmbipụta. Ọ bụ site n'ọnụ ka ha si akuziri ụmụ ha ma na-àhafèkwara ha omenala ha na usoro ebimndụ ha.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha iheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- Nye nkọwa ihe i chere gbasara ọnọdụ akụkọ ifo n'oge ugbu a.
- kọwapụta ụfọdụ ihe ndị na-echere akụkọ ifo Igbo aka n'oge ugbu a.
- tụpụta atụmatụ ụzọ a ga-esi belata ha.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Ihe Ndị Na-echere Akụkọ Ifo Aka Mgba n'Oge Ugbu A

Dịka akọwalara, akụkọ ifo bụ otu ụzọ akụghị mmiri ndị Igbo ji akuziri ụmụ ha ọtụtụ ihe tupu ndị ọcha abịa. Ma ugbua, e nwela ọtụtụ ihe na-agbazị mmemme akụkọ ifo mgba n'oge nke na ọ dịzị ka ihe na-achọ ịbụzị ihe e chefurula echefu. Ihe butere nke bụ ọtụtụ ihe ndi a ga-eleba anya n'ọmụmụ ihe yuniit a. Ikwubuzọ (2008) kọwaputara n'akụkọ ifo bụ akụkọ ndị a na-akọkarị n'oge ezumike; oge ụmụaka lụcahara ọrụ

ụbọchị ha. Ọgara n'ihu kwupụta na ha bụ akụkọ gbasara mbe na aghụghọ nakwa mmegbu ya, agụ na akpamike ya, atụrụ na nzuzu ya tinyere ebuleakọ na amamihe ya. N'iga n'ihu ọ kọwara na e nwekwara akụkọ gbasara nwata ichefu ọ̀jà ya n'ugbo, na etu nnupụisi siri dubaa ya n'ịgaghachi azụ n'ugbo ahụ mgbe chi jirila ka o weta ọja ya; etu o siri wee zute ndị mmụọ dị n'ụdị dị icheiche na ihe ndị sochiri ya. Oge oleghachịrị anya azu n'etu ihe dịbu n'oge mbụ na etu ọ dịzi tata, Ikwubuzọkwara arịrị na ihe emebiela.

Ọ bụ n'ihi ihe mmebi ndị a meziri ọtụtụ ụmụaka amaghịzị aka nri na aka ekpe ha. Ọtụtụ ụmụaka na-akpazị agwa dịka anụmanụ maọbụ ndị isi mebiri n'ihi na usoro ọdịnala e kwesịrị iji zulite ha bụzị ihe ọtụtụ mmadụ gbakụtara azụ n'ihi na ha na-eche na ọbụ ihe ndị mgbochie; na onweghịzị uru ọbara n'ụwa kịtaa. Mana nke a abụghị eziokwu, n'ihi na akụkọ ifo ndị a kabara nnukwu uru rue oge ugbu a.

Ọtụtụ ihe ndị ahụ na-echere akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a gụnyere: ọbịbịa ndị ọcha, ọnọdụ akụnaụba Naịjirịa, enweghị mmasị na e jighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe, ihe mkpasasị anya jupụtara ụwa tata dgz. A ga-elebanye anya n'ihe ndị a n'otu n'otu.

**NNWALE ONWE 1**

1. Kọwapụta ndịiche dị n'usoro mmemme akụkọ ifo n'oge mbụ na etu ọdị n'oge ugbu a.

## 3.2 Mmetụta Ọbịbịa Ndị Ọcha

Na mmalite obibi ndụ ndị Igbo, ha nwere ụzọ dị icheiche ha si azụlite ụmụaka na ibi ezi ndụ. Ụzụ dị otu a gbadoro ụkwụ n'agụmagụ ọdịnala ha nke akụkọ ifo so n'otu n'ime ha. Ha sikwa n'ụzọ dị otu a wee na-anọlị oge ma n-akpakwa onwe ha obi ọma. Mana ka oge na-aga, ndị ọcha batara obodo Naịjirịa. Mabata ha webatara ọtụtụ ihe dị icheiche dịka ekpemekpe ndị ọcha, ka e si agu na ka e si ede na ndị ọzọ. Ọtụtụ ihe ndị ọcha webatara na Naịjirịa bụ ihe bara uru ebe ụfọdụ ihe bụ ihe ndị webatara nsogbu ma ghasa usoro ebimdụ nke dịbu n'ala Naịjirịa; karịsịa n'ala Igbo. Ọ bụ nke a mere Achebe (1958) jiweekwaa arịrịsite n'ọnụ agwa bụ Obierika, onyesịrị na onye ọcha bụ onyeakọ; na o tinyela ọgbaaghara n'ihe jịkọtara anyị onụ; anyị wee bụrụzie ndị nọ icheiche.

Ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo mere ka ọtụtụ omenala ndị Igbo nke gụnyere agụmagụ ọnụ ha jiri dịka ha nọzị n'ọnọdụ chọrọ enyemaka. Ọbịbịa ha mere ka ọtụtụ ụmụafọ Igbo gbahapụzie usoro ebimndu ha, nkwenye, ekpemekpe ha dgz wee makuzie nkendịọcha ma an-ahụtazị nke ha dịka ihe dị njọ ekwsiri ikpochapụ. Okwu Obierika dabara adaba nkeọma. N'agbanyeghị na onwere ike, omenala na ọdịnanị ndị Igbo

abụghị ya kacha mma n'ụwa dum mana ọ bụ aha mmadụ kpọrọ nkịta ya ka ọ ga-aza. N'agbanyeghị na mgbanwe bụ ihe dị mkpa; ma mgbanwe nke ga-eme ka mmadụ tufue ihe oji ama mma wee na-agagharịzị n'isi, dịka onyeisi anaghị ahụ ụzọ adịghị mma.

Ọbịbịa ndịọcha bụ ihe nnukwu mmekpa ahụ nye agụmagụ ọnụ ndị Igbo, ọkachasị akụkọ ifo; n'ihi na ọtụtụ ihe so ndị ọcha wee bịa meziri ọtụtụ ndị Igbo na-ahụtazi agụmagụ ha dịka ihe abaghịzị uru. N'ihi nke a, ha anaghị enwezi mmasị ige akụkọ ifo maọbụịkọọrọụmụ ha ma ya fọdụịgba mbọịhụ n'akụkọ ifo ka na-aga n'ihu.

**NNWALE ONWE 2**

1. Kọwapụta ihe ị ghọtara dịka aka mgba akụkọ ifo na-enweta n'ihi mmetụta ọbịbịa ndị ọcha.

## 3.3 Ihe Mkpasasị Anya Dị n'Oge Ugbu a

Ihe ọzọna-echere akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a n'ala ndị Igbo bụ ụmụ ihe ọgbara ọhụru gụnyere nkanụụzụ, ekwentị, intanet, katuun, ihe onyonyo na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ọtụtụ ụmụ ihe ọgbara ọhụrụ ndị a akpọrọla aha na ndị ọzọ nọzị dịka nnukwu ihe ọgbatauhie n'ebe ọganihu akụkọ ifo dị. Ihe kpatara nke a bụ na ndị mmadụ werezịrị ihe ndị a nọchite anya akụkọ ifo n'oge e nwere ike iji wee mee akụkọ ifo. Nke a wee na-ebutezi ọnwụ akụkọ ifo; n'ihi ọnọdụ a gaba n'ihu, oge ga eru mgbe o gaghịzị enwe onye gana ekwute maka akụkọ ifo na ọtụtụ agụmagụ ọnụ/ọdịnala ndị Igbo ndị ọzọ.

N'oge ugbu kwa, ọtụtụ ndị Igbo, n'ihi ichọ ihe afọ ga-eri bụzi ndị pụrụ njembiri n'obodo ndị mepere. N'obodo ndị a mepere emepe, enwekwaala ọtụtụ ihe ndị e ji anọri oge ma na-ezurukwa ike n'oge arụchala ọrụ ụbọchị. Ụfọdụ mmadụ nwere ebe a na-egwu mmiri nke aka ha n'ụlọ ha, ọtụtụ ndị ọzọ na-agazi n'ụlọ sinima maka ihe nkiri, ọtụtụ ndị ọzọ na-agakwa n'ụlọ ọńụńụ na nkwari. Ikwubuzo kwara arịrị ma kọwapụta na kama ịhụzi ezinaụlọ ebe a na-akọrọ ụmụaka akụkọ ifo, ihe a na-ahụzi bụ ihenlere katuun dịka *Cinderella, Lion King, Tom* and *Jerry* na ndị ọzọ e mepụtagasịrị na VCD na DVD.

Nnyigide (2015: 4) kwukwara na ka ọ dị ugbu a, na agụmagụ na omenala ndị Igbo nke akụkọ ifo so n'ime ya anaghịzị aga n'ihu etu o kwesiri n'ihi ụfọdụ ihegụnyere ọbịbịa ndị ọcha na mba Afrịka na n'alaIgbo kpọmkwem, mmepe, ụka, nkanụụzụ na usoro agụmakwụkwọ ha webatara n'ala Igbo. Ihe ndịa niile bụcha nnukwu ihe ịma aka n'ihu nyere otuto na ọganihu ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe o zuruoke na dịka o si metụta akụkọ ifo kpọmkwem.

**NNWALE ONWE 3**

1. Kedụ ka katuun na ihe onyonyo ndịọzọ si wee buru ihe ndọghachịazụ nye nkwụdosi ike na ngawanye n'ihu nke akụkọ ifo Igbo?

## 3.4 Ọnọdụ Enweghị Ohere n'Akụkụ Ndị Nne na Nna

Ọtụtụ ndị nne na nna anaghị enwezị ohere maka onwe ha ma ya fọdụzịa maka ụmụaka ha. Ihe butere nke a bụ ọnọdụ ọjọọ nke akụnaụba Naịjirịa nọ n'ime ya n'oge ndị a; ọnọdụ afọ ekweghị ụkwụ zuruike. N'ihi na n'oge mbụ nne nwere ike nọrọ n'ụlọ maka ilekọta ụmụaka anya, ebe nna ga-apụ na-achọta ihe ezinaụlọ ya ga na-eri. Ọ bụrụkwanụ oge ndị nne na ụmụaka na-esonye n'ọrụ ugbo, oge arụchara ọrụ ụbọchị, onye ọbụla ga-enwezi ohere maka ịnọrị oge. Ọ bụ n'oge dị otu a ka a ga-enweike mee akụkọ ifo. Ma n'oge ugbu a ihe agbanwela; ihe adịghịzịkwa ka ọdị n'oge mbụ. Ọnọdụ ọjọọ Naịjiria hụtazịrị onwe ya; ọkachasị n'ebe akụnaụba ya dị n'oge ugbu a meziri na ndị nne na-esonyezi ndị nna n'ịpụ ịchụ nta ihe ezinaụlọ ha ga-eji dị ndụ. Ọtụtụ oge ndị nne na nna pụọ n'ọnụ ụtụtụ, nlọta ha abụrụzie n'ime abalị, oge ụmụaka nọzi ṇ'ụra. Ọ bụzịnụ ụmụaka nọ n'ụra ka a ga-eforo ifo; ka ọ bụ ndị nne na nna ikegwusiri site n'ọrụ ha rujiri chi ga-ekwu okwu ifo ifo. Ọnọdụ dị otu a wee bụrụ ihe oke mmekpahụ nye mmemme akụkọ ifo na mpaghara Igbo. N'ezinaụlọ ụfọdụ, ọ bụzị ndị ana-akwụ ụgwọ ka nlekọta ụmụaka na-anọzị n'aka. Oge ụfọdụkwanụ, ndị nlekọta anaghị abụ ndị Igbo, ha amaghị asụsụ Igbo ma ya fọduzie isu ya asụ. Kedụzị ka ha ga-esi enweike iforo ụmụaka ifo n'asụsụ ha anaghi asụ maọbụ aghọta.

N'aka nke ọzọkwa, dika Anyachebelu (2017) si wee kọwaa, na n'oge ugbu, ọtụtụ ndị Igbo, n'ihi ajọ ọnọdụakụnaụba obodo Naijiria nọ n'ime ya, na n'ihi ichọ ihe afọ ga-eri bụzi ndị pụrụ njembiri n'obodo ndị mepere. N'ụdị obodo ndi a mepere emepe ọtụtụndị mmadụ a naghịzị enwe ohere agbakọba maka egwu onwa, ebe ana anọ akọ akụkọ ifo oge a lụchara ọrụ ụbọchị. N'ihi na ọ bụghị ụdị obibi ebe ana-emekọrịta ihe ọnụ ka a na-ahụta n'obodo ndị a mepere emepe; tinyekwara na ndị si n'agbụrụ ndị ọzọ dị iche iche, na asụsụ ndị ọzọ na-ebikwazi n'otu mpaghra obodo ndị a mepere emepe.

Ndị nne na nna ndị kwesịrị ịkọọrọ ụmụaka ndị a akụkọ ifo bụzị ndị chụ nta ego agaghari na mpaghara ụwa dị icheiche. Ọtụtụndị nne na nna ndị Igbo anaghịalọta ebe ha gara ọrụ ụbọchị tupu chi ejimie; oge ahụ ụmụ ha alakpuolarị ụra abalị; ike agwụchakwuola ndị nne na nna ahụ n'akụkụ nke ha.

Ọzụzụ ụmụaka n'ọtụtụ ezinaụlọ ndị dị otu a na-adịzị n'aka ndị na-eku nwa na ndị na-elekọta ezinaụlọ anya ndị a na-akwụ ụgwọ. Ọtụtụ oge,

ndị dị otu a, anaghịrị abụ ndị Igbo. Kedụzị ka ha ga-esi akọrọ ụmụaka dị otu ahụakụkọ ifo ndị Igbo n'asụsụ ha amaghị ka esi asụ maọbụ aghọta?

**NNWALE ONWE 4**

1. N'uche nke gị, kedụ ihe ichere e nwere ike ime ka ndi nne na nna wee na-enwe ohere maka ụmụ ha n'agbanyeghị ọnọdụ akụnaụba Naịjirịa nọ n'ime ya n'oge ugbu a?

## 3.5 Ejighị Asụsụ na Omenala Igbo Kpọrọ Ihe

Ihe ọzọ na-echere akụkọ ifo aka mgba n'oge ugbu a bụ ejighị asụsụ na omenala Igbo wee kpọrọ ihe. Asụsụ so n'otu ihe e ji amata mba maọbụ agbụrụ ọbụla. Na-agbanyeghi nke a, ndị Igbo ejịghị asụsụ na omenala ha wee kpọrọ ihe dịka ọtụtụ agbụrụ ndị ọzọ siri were nke ha akpọrọ ihe. Ha na-aka enwe mmasị n'ebe ihe ndị si mba ọzọ wee bịa dị karịa ihe nke ha. Ha na-ahụkwa ihe ndi si esi bịa n'anya karịa ihe ndị nke ha nwere. Ha ejighi asụsụ na omenala ha kpọrọ ihe. Ụdị agwa dị otu a agaghị enyere ntolite n'ọganiihu akụkọ ifo aka n'ala Igbo n'ihi na ọ bụ asụsụ ka eji efo ifo. Ndi Igbo na-atu ilu si na onye kpọọ abọ ya mkpọmkpọ; ụmụaka ewere ya kporo aja. Ọ bụrụ na ha ejighi asụsụ ha na omenala ha akpọrọ ihe; ọ bụzị onye ka ha na-atụ anya ka o mere ha nke ahụ?

Ọtụtụ ndị nne na nna na-ahụta asụsụ na omenala Igbo dịka ihe ekwesịghị itinye mmasị n'ime ya ma ya fọdụ ikuziri ụmụaka ha. Ha n'ahụta ya dịka ihe dị ala, ihe enweghị uru ọbara na ihe bụ ihe nleda anya. Ndi nne na nna dị otu a na-aka enwe mmasị n'asụsụ ndị mba ọzọ dịka asụsụ Bekee, French, Chaịniiz na ndị ọzọ karịa n'asụsụ Igbo. Ha nwere ike ịkwụ nnụ puku naira maka iji hụ na ụmụ ha mụtara asụsụ ndị a akpọrọ aha karịa ịmụta asụsụ ha. Ha na-ahụta asụsụ ndi ̣a na ndị ọzọ dịka asụsụ dị elu karịa Igbo nke na onye mụtara ha bu onye gụrụ akwụkwọ maọbụ onye hụrụ ụzọ. Mana nke a abụghị eziokwu n'ihi na a na-esite n'ụlọ adị mma tupu apụwa ezi. Onye ọbụla na-amaghị asụsụ na omenala ya dika onye enweghị ntọala ọbụla. Ikuku nwere ike ibuga ya ebe ọbụla ọ masịrị ya. A ga-ahụta agwa a a na-akpaso asụsụ na omenala Igbo nkeọma na mahadum ebe a na-amụ asụsụ dị icheiche; ụmụ afọ Igbo na-aka enwe mmasị ịmụ asụsụ ndị ọzọ karịa Igbo. Nke a bụghịkwa nsogbu dịịrị naanị asụsụ Igbo maọbụ ndị Igbo, ọ metụtara ọtụtụ asụsụ na agbụrụ ndị dị na Naịjiria.

Ọ bụrụ n'agwa dị otu gaba n'ihu, ọ ga abụ nnukwu ihe nsogbu nye ngawanye n'ihu akụkọ ifo na ihe ndi ̣ọzọ metụtara Igbo.

**NNWALE ONWE 5**

Kedu ka enweghị mmasị n’ebe asụsụ Igbo nwere ike isi bu ihe ọgbatauhie nye akụkọ ifo Igbo?

## 3.6 Keduzi Ka A Ga-esi Kwọọ Onye Ukwu Wara?

N’agbanyeghịọtụtụnsogbu na-echere akụkọ ifo Igbo aka n’ihu n’oge ugbu a, akọmakọ ifo ka na-agakwa n’ihu n’ebe ụfọdụ na n’ụzọ dịgasi icheiche. Akụkọ ifo ka dị ndụ ma n’agakwa n’ihu n’ọtụtụ akụkụ ala Igbo. Anyachebelu (2017) kọwara n’ọtụtụ ụlọọrụ mgbasaozi dịka nke Redio na Tiivii na-ewepụtakwa ohere akọrọ ụmụaka akụkọifo, dịka nke ‘Tales by the Moonlight’ nke Nigerian Television Authority (NTA) na-egosipụta. Ọ kọwapụtakwara n’ọtụtụ ndị ode na-ewebatakwa akụkọ ifo na-edemede ha, iji wee kwalite ọnọdụ akụkụ ifo. Ndị na-emepụta ihe nkiri dịka ejije, na-ejizi akụkọ ifo emere akụrụ ngwa ha ji emepụta ihe nkiri ha. Anyachebelu (2017) kowara na o bu site n’akuko ifo ‘Nwagbọghọ na-aho di’ ka esi wee mepụta ejije ndị Igbo ahụ a kpọrọ ‘Ọdụm’ na ‘Akwaeke’ na ‘Ọdụm’ na ‘Ogbuagụ’. N’aka nke ọzọkwa, ejije a kpọrọ ‘Egwu Ọnwa’ bụkwa ihe ndị a na-eme n’oge egwu ọnwa nke gụnyere akụkọ ifo bụ ihe mejupụtra ya; n’agbanyeghị na ụfọdụ ihe e gosiri n’ejije a egosichaghị ha n’ozuzu oke.

E nwekwalarị ọtụtụakwụkwọ ebe achịkọtara akụkọ ifo ndị Igbo ụfọdụ n’ụdị ederede. Ha gụnyere: *Nza na Obu* nke F.C. Ọgbalụ (1973), *Ọka Mgba* nke J.C. Iroaganachi (1973), *Mbediọgụ* nke F.C. Ọgbalụ (1973), *Ọmalịnze* nke E.N. Emenanjọ (deziri) (1977), *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara* nke Anya Iwe (1977), *Nwaada Lọọlọ* nke C.B. Nnabụihe (2005), na *Eke na Egwurugwu* nke I.U. Nwadike (2005) na ọtụtụ akwụkwọ nnchịkọta akụkọ ifo ndị ọzọ a kpọghị aha n’ebe a.

Ọmụmaatụ ndị a gosipụtara na olileanya ka dị n’ebe akụkọ ifo Igbo dị; n’agbanyeghị na akụkọ ifo enwetachabeghị ọnọdụ na nturuùgò tosịịrị ya n’agụmagụ Igbo, dika ide ji agụmagụ Igbo.

Nke mbụ, bụna onye ọbụla kpọrọ onwe ya ezigbo nwaafọ Igbo kwesịrị ịgbalịsike nye nkwado nke ya n’ebe ọmụmụ na nkuzi asụsụ na omenala Igbo dị.

Anyachebelu (2017) kọwapụtara wee kwue, na ọ bụ oke na ọrụ dịrị ndị Igbo bụ igbalisi ike lebanye anya nke ọma n’agụmagụ ọdịnala, karịsịa, n’akụkọ ifo nke bụ ngalaba agụmagụ Igbo nwerela oke nledaanya. Anyachebelu kọwakwara mkpa ọdịka ndị ọchịchị, ndị na-emepụta ejije, ndị nkụzi, ndị ọrụ ụka, ndị ụlọ ọrụ redio na nke onyonyo, ọhanaeze ndị Igbo na mmadụ niile jikọta aka ọnu gbalisie ike iji hụ n’akụkọ ifo bụ ihe ga na-agawanye n’ihu, n’ihi na-anyụkọọ mamiri ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ.

Ndị nne na nna na ndịniile ọrụilekọta ụmụaka dị n'aka ga na-ewepụtakwa ohereiji kọọrọ ụmụ ha akụkọ ifo. Ọga-abụkwa ihe magburu onwe ya ma ọ bụrụ na ndị na-emepụta usoro esi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, ga-etinye akụkọ ifo n'usoro nkụziihe n'ụlọakwụkwọ. Ọ ga-adịkwa mma ma ọbụrụ na ndị mgbasaozi (ụlọọrụ redio, onyonyo maọbụ sinima), ga-agbakwa mbọ na-ewepụta oge iji kọọrọ ụmụaka akụkọ ifo na redio maọbụ na-egosipụta mmemmeakụkọ ifo na televishọnmaọbụ na sinima; dịka ụfọdụ ụlọọrụ maliterela ime.

Ikwubuzo (2008) kwukwara n'itinyekwa akụkọ ifo ndị a na VCD/DVD ga-enyekwa aka n'ebe ọdị ukwuu. Nke a ga-akpalite mmasị ụmụaka ịdị na-elere ha karịa ndị mmụọ na ụmụagbara, katuunndị ọcha na-egosị ha; nke ha na-esite n'ime ha amụta ọtụtụ ihe ọjọọ dị icheiche.

Ọdịkwa mkpa ịna-ewebata akụkọ ifo ndịa n'akwụkwọ agụmagụ dịgasị iche iche dịka obodo mere n'akwụkwọ ọgụgụ Igbo ya kpọrọ*Ụwadiegwu* nakwa*Things Fall Apart* nke Achebe (1958) dere.

Ndị nchọcha ga-agbalịsikwa ike ịhụ naamalitere ịtụgharị akụkọ ifo ndị Igbo n'asụsụ ndịọzọ, ọkachasị n'asụsụ Bekee.

Atụmatụ ndịa niile bụkwa ihe aga-amalite ugbua chi ka dị wee gbasobe, tupu chi ejie.

## 4.0 MMECHI

Akụkọ ifo Igbo bụ nnukwu ngwaọrụe ji azulite umuaka n'ala Igbo. N'ihi nke a ekwesịrịịhụ na oguzogidesiri ike ma buru ihe ga na-agawanyekwa n'ihu.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, akụkọ ifo Igbo anaghị agachazi n'ihu dịka ọ na-eme n'oge gara aga. Ihe butere nke a bụ ụfọdụ ihe ndị elebara anya n'iheọmụmụ a.

## 6.0 IHE OMUME

1. Depụta ma kọwapụta ụzọ ndị ọzọ ichere ga-enye aka iji mee ka akụkọ ifo Igbo bụrụ ihe ga na-agawanye n'ihu.
2. N'agbanyeghị na enweela ụlọmbipụta akwụkwọ dịgasị icheiche na ihe mkpasasị anya dị icheiche mmemme akụkọ ifo ka na-agakwa n'ihu. Tụlee nke a.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann.

Anyachebelu, A. L. (2016). Retrieving the Pearls of the Past: An Adaptation of Igbo Folk-Narrative Strategies into Video Film. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*. Vol. 1, (1). 170-190.

Anyachebelu, A. L. (2017). Ọnọdụ Akụkọ Ifo N'Oge Ugbu a. *Igede Igbo: A Journal of Igbo Studies*. Vol. 3 (1), 100-112.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Ikwubuzo, Iwu (2008). Igbo Oral Literature and the Igbo Youths Today: What Literary Legacy for Posterity, in I. Ikwubuzo, C. Ohiri-Aniche & C. Nnabuihe (Eds.) *Udezuluigbo: A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu*. Lagos: Green Olive Publishers, 39-56.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & Fodor Academy.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ọfọ na Ogu Projects Africa.

Nnyigide, M. N. and Okoye A. N. (2016). "Igbo Folktales and Igbo Youths Development: The Need for Revitalization of Igbo Folktales". In *Mgbakoigba, Journal of African Studies.* Vol. 6 (1).

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Obodo, N. B. (1980). *Uwadiegwu* Enugwu: Longman Nigeria Ltd.

Ogbalu, F. C. (1973). *Nza na Obu.*Onitsha: University Publishing Co.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

Onuko, T. and Ezeuko, R. (2012). "Making Children and Youth Literature Available in the Nigerian Society through Translation" in Anedo, A. O. and Udemmadu, T. N. (Eds). *The Ideal Man: A Festschrift in Honour of Professor Obed Muojekwu Anizoba*. Awka: Apple Books.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# MODUL 3 EMUME/AKỌMAKỌ IFO KPỌMKWEM


Yunit 1 Usoro Mmalite na Mmechi ifo
Yunit 2 Ọkọakụkọ Ifo Mmepụta Akụkọ ifo Nto - Ebe emereme n’ifo Igbo
Yunit 3 Ndi ogentị n’Ifo
Yunit 4 Nzịpụta Ekere uche onwe n’Ifo dịka nchepụta ọkọ akụkọ


## YUNIT 1 USORO MMALITE NA MMECHI

### NDỊNA


1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Usoro Mmalitena Mmechi Ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi


## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo dịka otu n’ime agụmagụ ọdịnala nwere usoro mmalite na usoro mbido. N’oge mgbede, oge ụmụaka rụcharaọ rụ ụbọchị ha, ha na-agbakọta maka ịnọrị oge n’ihe ndị Igbo kpọrọ egwuọnwa. Otu n’ime ihe ụmụaka na-eme n’oge ahụ bụ ịkọ akụkọ ifo. Akụkọ ifo ndị Igbo nwere usoro esi amalite ma na-emechikwa ya.

Tupu ọkọakụkọ amalite ịkọ akụkọ kpọmkwem, ọ na-enwe ihe ebe ndị ogee na-enwekwa ihe ha na-azasoya. O nwekwara ike malite site n’ịtụ ilu ụfọdụ, ebe ndị ogee ga-azasokwa site n’ikwuru ilu ahụ n’isi njedebe.

Ihe mere eji ewebata okwum malite ndị a bụ iji wee kpọkọta akọnauche ụmụaka ọnụ, ka mmụọ ha wee dị n’ebe akụkọ aga-akọrọ ha dị. N’ihina ọ bụrụ n’uche ha adịghị n’ime akụkọ ahụ; ha agaghị enwe ike ịmụta ihe atụrụ anya na ha ga-amụta n’imeya.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụ a, ị ga-enweike:

- kọwapụta ihe kpatara e ji ewebata okwu mmalite na okwu mmechin’akụkọ ifo
- nye ọmụmaatụ okwu mbido ma ọ bụ ilu ndị eji amalite akụkọ ifo.
- nye ọmụmaatụ ụfọdụ okwundị eji emechi akụkọ ifo.

# 3.0 NDỊNA KPỌM KWEM

## 3.1 Usoro Mmalite na Mmechi Ifo

**Okwu Maọbụ Ilu Mbido**

Akụkọ ifo nwere okwu maọbụilu e ji ebido ya. Ọ naghị abụ ụmụaka zukọta maka ịkọ akụkọ ifo, ọkọọ amalite ozigbo kọba akụkọ ahụ. A na-enwe okwu ụfọdụ maọbụ ilundị e ji amalite ifo dịka e si wee gosipụtan'okpuru:

| Ọkọọ | Ndị Ogee |
|---|---|
| Chààkpii/ Chààpịị/ Chààkpu | Yọ̀ọ̀ |
| Tààkwii/ Tààkwịị | Hàà |
| Òòtii; | Wọ̀ọ̀ |
| Ùfè tu | Ọ̀yọ̀ọ̀ |
| Eduu/Èlue | Iyàà |
| Iduu Hii | Hii |
| Mbe Dii | Dii |
| Chakpii | Wọọ |
| Otii | Ọyọọ |
| O ruru otu mgbe | Otu mgbe/oge e ruo |

Ọmụmụaatụ: Akụkọ "Ugoloọma na Nwa ya" ndị dị na *Nwaada Lọọlọ,* gosipụtara usoro mbido ifo Igbo.

**Ugoloọma na Nwa ya**

Egbeliyoo – Iyoo

O ruru otu mgbe, n'obodo Iduunaọba. O nwere otu nwaanyị aha ya bụ Ugoloọma. Nwaanyị ahụ mara mma nke ukwu. N'obodo Iduu niile, ọ dịghị onye mara mma ka nwaanyị ahụ. Nwaanyị ahụ mụtara otu nwa a na-akpọ Anyanwu. Ugoloọma nwere otu eyo ọgwụ na-agwa ya ihe dum. Kwa ụbochị, o teta ụra n'ụtụtụ, ọ jụọ enyo ya ahụ ka ọ gwa ya nwaanyị kachasị mma n'obodo Iduu niile. Enyoya ahụ ga-agwa ya na ọ bụ ya kachasị mma. O nwee aṅụrị. E mechaa, nwa ya ahụ bụ Anyanwụ wee tolite nwaagbọghọ, maa mma karịa nne mụrụ ya bụ Ugoloọma. Mma ahụ nwa ya mara na-ewute nne ya n'obi nke ukwu n'ihi na ọ chọghị ka o nwee onye ka ya mma n'obodo Iduu. O ruo otu ụbọchị o tetara ụra, were enyo ọgwu ya juọ ya onye kacahsị mma n'obodo Iduu. Enyo ya ahụ agwazie ya na ọ bụ nwa ya bụ Anyanwụ bụ onye kachasị mma ugbua. Nke ahụ wutere ya nke ukwu. O wee kpọọ nwaodibo ya, nye ya iwu ka o jide nwa ya ahụ bụ Anyanwụ gbuo ya ka ọ nwụọ. Nwa odibo ya ahụ were mma jee ka o gbuo Anyanwụ mana obi ekweghi ya. O wee gwa Anyanwụka ọ gbafuo banye n'oke ọhịa maọbụ n'ala mmụọ n'ihi na nne ya bụ Ugoloọma chọrọ igbu ya.

Nwata ahụ gbakwara ọsọ si n'ala Iduugbafere n'ala mmụọ. Mgbe o ruru ala mmụọ, ọ banyere n'otu ụlọ ga zoo n'ihi na o nweghị onye nọ n'ụlọ ahụ. Mgbe ọ banyere n'ụlọ ahụ, ụra buuru ya n'ihi na ike gwụrụ ya nke ukwu. Mgbe ndị mmụọ nwe ụlọ ahụ batara wee hụ Anyanwụ, iwe were ha nke ukwu. Ha wee chọọ igbu ya. Mgbe ha were osisi ka ha kgbuo ya, ha wee hụ oke mma nke ọ mara. Nke ahụ mere ka ha chegharịa hapụ ya.

Mgbe Ugoloọma lere anya Anyanwụ ma ọ hụghị, o chere na ọ nwụọla n'ezie. O ruo otu ụbochị, ya ajụọ enyo ọgwụ ya ahụ onye kachasị mma n'Iduu niile. Enyo ya ahụ gwakwara ya na ọ bụ Anyanwụ kachasị mma, na ọ nọ ndụ n'ala mmụọ. Nke a wutere nwaanyị ahụ nke ukwuu na o nwere onye ka yamma n'obodo Iduu n'ihi na o chere na nwa ya ahụ bụ Anyanwụ anwụọla. Ka e mechara, o wee gawa n'ala mmụọ ka o je gbuo nwa ya ahụ. Mgbe o rutere n'ala mmụọ, o kwudoro nwa ya ahụ naanị n'ụlọ wee chọọ ka ọ kụgbuo ya. Ma mgbe ọ na-achọ ka ọ kụgbuoya, ụmụmmụọahụ Anyanwụ nọ na be ha batakwara wee hụ nwaanyị ahụ.

Mgbe Ugoloọma hụrundị mmụọ ahụ, o wee gbapụ ọsọ ka ọ gbalaga mana ndị mmụọ ahụ nwudere ya wee kụgbo ya, ọ nwụọ. Nwa ya ahụ bụ Anyanwụ were laghachi azụ n'ala mmadụ were bụrụ onye kachasị mma n'ụwa niile.

Ihe mmụta nke a na-akuziri anyị bụ na ntajianya adịghị mma n'uwa.

Ọ bụrụ n'ilee anya, ị ga-ahụ na okwu e ji malite ifo a bụ "Ugoloọma na Nwa ya" bụ-
*Egbeliyoo*, ebe a tụrụ anya na ndị ogee ga-azaso- *Iyoo*

Usoro a e siebidoifon'ala Igbo nwere ikeigbanwe site n'otu mpagharaala Igbo, ruompagharaọzọ. Omumaatu:

| | **Mpaghara** | **Ọkọọ** | **Ndị Ogee** |
|---|---|---|---|
| 1. | Owere (Imo) | Ifo diii | Dìì |
| 2. | Owere (Imo) | O ruru otu ụbọchị | Otu ụbọchị eruo |
| | Olu (Imo) na Awgu | M̀bè dei/dii/deyii | Dei/Dìì/Deyii |
| 4. | Nsugbe/Ụmụeze (Anambara) | Ịtam gbagidi gbagidi obodo mbe | Gbakwasị otu obodo mbe |
| 5. | Afikpo | Ọtịị | Ọyọọ |

E nwekwaraikeiji ụfọdụ ilu ndị awerebido akụkọ ifo Igbo:

| | |
|---|---|
| Nkịta ǹyara akpa | Nsị agwụ n'ọhịa |
| Ọhịa ogwu mara ọkụkọ | A naghị epio ya epio |
| Dintaburuegbe | Anụ agwụ n'ọhịa |
| Agū bàa n'ọhịa | M̀gbàdà àchịri umē n'aka |
| M̀miri rīri ụ̄gbalà | A nāghị egwū yā ègwù |
| Òke bàa nà m̀kpọ | Azụ̀ àgwụ nà m̀kpọ |
| M̀mirì ju olùlù | Ọ nāghị èkwe akịrị kwaa |
| Nkwụ ọkà dàchie ụzọ | Nwaànyị̀ ènyuo (àrịa) yā elū |
| Isi akwụ̄ dàa n'àlà | Nwaànyị̀ àrịa yā elū |
| M̀mirī rīri nwa awọ̀ | A nāghị egwū yā ègwù |

Emenanjo (1977: xiii), kọwara na enwekwara ike iji okwu ndị a na-esotanụ n'ebe ụfọdụ ma ana-amalite akụkọ ifo:

N: Onye sị nà Èke Ụ̄tụtụ̀ azụ̄ghị azụ
A: Ọ̀ chịrị ndị be ya nwụnye
N: A sị nà a bịàlụ̀
A: Ọ̀bịàlụ̀ abị̄ana be ānyị
Kutu Ezē Ọbịalụ

Ọkọọ ga-agazi n'ihu n'ịmalite akụkọ ya site n'okwu ndị a ndị ogentị gana-azasokwa ya.

| **Ọkọọ** | **Ogee** |
|---|---|
| Ndị be anyị, o nwereakụkọ m ga-akọrọ unu | Kọọrọ anyị ma yadịkwaụtọ/Kọọrọ anyị, anyị ga-egentị nụrụ iheị ga-ekwu. |
| O nwere akụkọ m ga-akọrọ ụnụ | Kọọrọanyị ka obi dị anyị ụtọ |
| O nwere akụkọ m ga-akọrọ ụnụ | Akụkọ màkà gịnị? |
| O rùrù otū m̀gbè | Otū m̀gbè eruola |

**Okwu Mmechi**

Ifo nwekwara okwu ndị e ji emechiya. Oge ụfọdụ ọ bụ okwu e ji ebido ya ka e ji emechikwa ya. Ọmụmaatụ: na ngwụcha akụkọ, ọkọakụkọ nwere ike sị

'Iduu Hii' maọbụ 'Chakpii' ndị na-ege ntị azaa 'Hii' maọbụ 'Wọọ'. Ọ nwekwara ike si 'n'ebe a ka akụkọ m kwụsịrị, ndi ogenti azaa ya, 'nnọọ'. Ogeụfọdụ, o nwekwara ike bụrụ okwu ndị e ji malite ifo, ka a ga-e ji were na emechikwa ya.

Ọmụmaatụ okwu eji emechi ifo Igbo dị n'**a**kụkọ'Nnabe na Mbụzụ'.

**Nnabe Na Mbụzụ**

O ruru otu mgbe, Mbe natara ozi na ọgọ ya nwoke anwụọla. Onye ọgọ ya nwoke nwụrụ kwesịrị iku ndị egwu ka ha gụọrọ ya egwu. Oge ime ọkwụkwụ ọgọ Mbe ruru, Mbe achọghị ikuru ndị egwu gaa ebe ndị ọgọ ya. Kama ikuru ndị egwu ọ ga-akwu ụgwọ, Mbe gakwuuru enyi ya Mbụzụ rịọ ya ka o soro ya gaa n'ebe ndị ọgọ ya. Ọ gwara Mbụzụ sị, ọ bụ gị ga-agụrụ m egwu n'ebe ndị ọgọ m. Mbụzụ ajụọya, sị "Gịnị mere ị chọghị ịgụ egwu ahụ n'onwe gị? Mbe asị ya na ọ bụ n'ihi na ya enweghị olu ịgụ egwu. Mbụzụ asị ya, "kụọnụ ndị egwu. Ọ bụ etui be gị na-eme".

Mbe asị ya na ọ dịghị onye ọzọ ya chọrọ iku karịa naanị enyi ya Mbụzụ. Mbe asị na ya nwere olileanya na Mbụzụ agaghị ekwe ka ihere mee ya. Oge Mbe kwuchara etu a obi tọrọ Mbụzụ ụtọ n'ihi oke ugwu enyi ya Mbe nyere ya. Ọ jụrụ Mbe ihe ọ ga-eme na etu o si agụ egwu ahụ. Mbe kọwaara ya ihe niile. Mbe sịkwara ya, "Ị gaghị apụta n'ọha mmadụ agụ egwu ahụ. Kama ị ga-anọ n'ime akpa m nya n'ubuaka. Mgbe ọbụla m nyobara anya n'ime akpa, gị amalite gụwa egwu".

Mbụzụ jụrụ Mbe ihe ọ ga-enye ya ma ya mee ihe o kwuru? Mbe asị ya na ha abụọ ga-ekeri ihe niile e nyere ya n'ebe ahụ. Mbụzụ ekwere isoro ya jee.

Mgbe a sịrị ndị egwu gụwa egwu, ndị ọbụla e kuru egwu na-agụ etu ha nwere ike. Ndị egwu ọbụla gụchara, a kụọrọ ha aka. Ya eruo Mbe n'aka ịgụ egwu nke ya. Ndị guzoro na-agba elile ebido chịwa ya ọchị. Ya agba ha nkịtị, nyoba anya n'akpa ya, mewe ọnụ ya dịka ọ na-agụ egwu. Otu ntabianya ahụ, olu egwu dị ụtọ adawa. Egwu a e chere na Mbe na-agụ kachasị egwu niile a nụrụla n'ebe ọbụla ụtọ.

Mgbe Mbe kwụsiri egwu ya, ndị niile nọ n'ebe ahụ akụọrọ ya aka. Ndị ọgọ ya eburu nri na mmanya butere ya, nyekwa ya ihe ọbụla ọ chọrọ. O wekwaara nri na mmanya ndị a nyetu Mbụzụ nọ n'akpa ya. Oge Mbe natacharala ekele e kelere ya na ihe oriri niile, nganga eju ya obi. Ya echefuo Mbụzụ mere ka o nweta ọnọdụ dị etu a, ihe a o mesoro Mbụzụ bụ anyaukwu. Ọ dịghịkwa nri na mmanya ọzọ o nyetụrụ Mbụzụ ọzọ. Ọ bụzi naanị ya riri ihe niile.

Oge e bidoro ịgụ egwu, Mbụzụ emechie ọnụ ya. Ọ gụghịkwa gwu ọzọ. Ihere mere Mbe, nke mere na o were anya ihere gbapụ, gbalaa. Ọ buzị Mbụzụ ka nsọpụrụ na onyinye niile dịịrị n'ụbọchị ahụ, n'ihi na o siri n'akpa Mbe pụta, e wee mata na ọ bụ ya bụ onye na-agụ egwu ahụ e cheere na Mbe gụrụ.

Ufe chakpii!
Wọọ!
Okwu mmechi ifo bụ *Ufe chakpii*! Wọọ! Ọ bụrụ na ọkọọ kọchaa akụkọ ya, ọ ga-asị*Ufe chakpii!*; ndịogentị ga-aza ya*Wọọ!*

**NNWALE ONWE**

1. Kedu okwu ndị e ji amlite ma na-emechi akụkọ ifo n'obodo gị?
2. kedu ihe ghọtara bụ ọrụ okwu mmalite ndị e ji amalite ịkọ akụkọ ifo na-arụ nakwa okwu mmechi?

## 4.0 MMECHI

Akụkọ ifo nwere usoro e si amalite ma na-emechịkwa ha nke nwere ike ịgbanwe site n'otu mpaghara ala Igbo ruo mpaghara ọzọ. Ndị ogee na-esonyekwa n'okwu mmalite maọbụ ilu ndịa site n'ịzaso ihe ha kwesiri ịzaso.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Usoro mmalite na mmechi akụkọ ifo Igbo bụ otu n'ime njirimara akụkọ ifo Igbo, n'ihi na-ewepụ ha akụkọ ifo agaghị abụcha ihe o kwesiri ịbụ. N'ihi ya onye ọbụla na-efo ifo Igbo ga-agbaso usoro mmalite na mmechi iji wee mee ka akụkọ ifo ahụ bụrụ ihe okwesiri ịbụ ma nyekwa ihe a chọrọ.

## 6.0 IHE OMUME

1a. Kedụ aha obodo gị?
1b. Kedụ aha okpuru ọchịchị ọ di ṇ'imeya?
1ch. Kedụ steeti ọ dị n'imeya?
2a. Kedụ kandị obodogị si amalite ifo ifo?
2b. Kedụ ka ha si emechi ifo?
3. Foo otu ifo ma gosipụta ka okwu na ilu mmalite si wee gbaa elu na ya.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales*. Ibadan: Oxford University Press.

Ikwubuzo, Iwu (2008). Igbo Oral Literature and the Igbo Youths Today: What Literary Legacy for Posterity, in I. Ikwubuzo, C. Ohiri-Aniche & C. Nnabuihe (Eds.) *Udezuluigbo: A Festschrift in*

*Honour of Sam Uzochukwu*. Lagos: Green Olive Publishers, 39-56.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C.B.  (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1973). *Nza na Obu.*Onitsha: University Publishing Co.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# YUNIT 2 ỌKỌAKỤKỌ IFO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna Kpọmkwem
3.1 Ọkọoakụkọ ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

N’emeremeakụkọ ifo, a na-enwe otu onyega-akọpụtaakụkọ ọbụla, n’otuoge. Mmadụ niileanaghị akọ akụkọ n’otu ogenan’otu ebe. Ọ bụrụ nanke a mee, ọ ga-adịkaihendị ara maọbụ ihe ndị amaghị ihena-eme. Abịakwan’akankeọzọ onweghị onyega-anụ iheibeyana-ekwu.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunitiheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- Kọwapụta ihe kpatara eji ewebata okwu mmalite na okwu mmechi n’akụkọ ifo
- Nye ọmụmaatụ okwu mbido ma ọbụ ilu ndi eji amalite akụkọ ifo.
- Nye ọmụma atụ ụfọdụ okwu ndị ejiemechị akụkọ ifo.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Ọkọakụkọ Ifo

N’emereme akụkọ ifo, a na-enwe otu onyega na-akọpụta akụkọ ọbụla otu oge. Mmadụ niileanaghị akọ akụkọ n’otu oge na n’otu ebe. Ọ bụrụ nanke a mee, ọ ga-adịka ihe ndị aramaọbụ ihendị amaghị ihena-eme. Abịakwa n’aka nke ọzọ onweghị onyega-anụ ihe ibe ya na-ekwu. Ọkọọ nwere ikebụrụ okenye ma ọbụ nwata. Ọ bụrụ na ọkọọ amalite ịkọ akụkọ ya ndị ọzọ niile ga-anọdụ nwayọọ na-ege akụkọ ya. O bụrụ na ọkọchaa, ọ ga-ajụ ndị geere akụkọ ya ajụjụ ụfọdụ.

Ọkọakụkọ nwereike ịgbanweolu ya, iji wee mee kaakụkọ ya dị ire. O nwere ike iweli olu elu ma ọbụ wetueya. Ọ nwekwara ikike iji akụkụ ahụ yaọbụla wee gosipụta akụkọ ya. Ihe ndị a niile bụ iji wee mee ka akụkọ ya dị ire ma metụtakwa ndị ogee nke ọma.

Ọ bụkwa ọrụ dịịrị ọkọo ịmata ụdị akụkọ ọ ga-akọ n'oge ọbụla site n'iburu ụzọ chọpụta ụdị ndị ogee o nwere. O kwesịkwara ịmata oge ọ ga-agbanwe agwa ndị nọ n'akụkọ ya ka ndị ọ na-akọrọ akụkọ wee nweike irite uru n'akụkọ ya.

Ọkọ akụkọ nwere ike bụrụ mmadụ nkịtị maọbụ ndị nwere nka maọbụ ndị ọrụ ha bụ ịkọ akụkọ. Ihe dị mkpa bụ na ọkọo ga-enweike ijidata ndị oge nkeọma n'isonye n'akụkọ ya; nke ọzọ bụrụkwa na ọ ga abụ akwa akwụrụ n'akụkọ ọ chọrọ ịkọ.

**NNWALE ONWE**

1. Kedu ihe mere ọkọakụkọ ifo ji agbanwe olu ya mgbe ọ na-akọ akụkọ ifo?
2. Gịnị merekwara ọkọakụkọ ifo ji ajụ ndị geere akụkọ ya ajụjụ ma ọ kọsịa?
3. Kedụ ihe ndị ajụjụ ahụ na-arụ?

## 4.0 MMECHI

Na mmechi, n'ihi mkpa ọkọo dị n'akụkọ ifo, ọ ga-adịkwa mkpa ma ọbụrụ na ndị na-emepụta ejije achọọ iji akụkọ ifo dịka ngwaọrụ ejije ha, ka ha gbaa mbọ hụ na ha na-ewebatakwa ma na-egosipụta kwa ebe ọkọo no n'ọrụ, n'ihe onyonyo ha. Nke a ga-enyere ụmụaka aka ịmata nkeọma usoro esi eme mmemme akụkọ ifo n'oge mbụ; nke ọtụtụ n'ime ha gbanwerela n'oge ugbu a.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Ọkọakụkọ dị mkpa n'akụkọ ifo ndị Igbo n'ihi na emebere akụkọ ifo ka ọ bụrụ ihe a ga na-akọpụta n'ọnụ. Ma n'oge ugbu a, e nwere ike ịgụrụzị akụkọ ifo n'akwụkwọ; n'ihi na ọtụtụ akụkọ ifo abụrụla ndị a chịkọtarala wee detuo n'akwụkwọ. Ma ụdị ọnọdụ dị otu agaghị emekwa akụkọ ifo ka ọ gharazịa ịbụ agụmagụ ọnụ/ọdịnala.

## 6.0 IHE OMUME

1. N'uche nke gị, kedụ ọrụ dịrị ọkọọ n'ebe akụkọ ifo Igbo dị?
2. Ma okọọ anọghị ya mmemme akụkọ ifo agaghị adị ire. Tulee nke a.
3. Dejụpụta ihe ụfọdụ ichere ga-enyere ọkọọ ịkọ akụkọ ya nkeọma.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition*. Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. Ph.D Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Mba, B. M. and Mba, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo: Igbo Oral Literature*. Onitsha: Africana Publishers.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Nigeria: Africana First.

Thompson, S. (ed.) (1977). *The Folktale*. Berkeley: University of California Press Ltd.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# YUNIT 3 NDỊ OGENTỊ N'IFO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
 3.1 Ndịọgentị n'Ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo bụ ihe e mepụtara ka a na-eme, n'ihi ya o na-enwe onye na-akọ akụkọ ma nwekwa onye maọbụ ndị na-egere akụkọ. Otu n'ime ihe e j eme akụkọ ifo bụ iji kpaa ndi obiọma/nọrịa oge tinye kwara ịkwalite ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji nwee ndị ogee n'akụkọ ifo. A ga elebazi anya n'uju banyere nke a n'ebe a.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunitiheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- kọwapụta ndị bụ ndị ogee n'akụkọ ifo
- kwupụtaurundị ogee baran'akụkọ ifo
- kọwaaụdị ndị na-emebendị ogee n'akụkọ ifo Igbo.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Ndịọgentị n'Ifo

Ndị ogee/onye ogee maọbụ ndị ogentị/onyeogentị bụ ndị maọ bụ onye na-anọdụ wee na-ege ihe ọkọọ na-akọ. Ihe nke a pụtara bụ na enwere ike nwee naanị otu onye ma ọbụ karịa a na-akọrọ akụkọ ifo. Ndị ogee a/onye ogee anwere ikebụrụ ụmụaka/nwatakịrị maọbụ ndị okenye. N'ihi n'agụmagụ ọdịnala bụ ihe ọha zụkọtara ọnụ wee nwere; usoro mmepụta akụkọ ifona-abụ ihe ọtụtụ mmadụ na-esonye n'imeya.

N'ọtụtụ oge, ndị ogee na-abụkarị ụmụaka, n'ihina dịka ekwurula, ụmụakabụ ndị akaraburu n'uche wee na-efo ifo. Ndị okenye ụfọdụ na-enwekwammasị n'eb eakụkọ ifo dị. Ọ bụrụ na ndị okenye dị etu a esonyen'igere akụkọ ifo aga-akpọkwa ha ndị ogee, n'agba nyeghị na ha

bụ ndị okenye. Ihenke a pụtarabụ na ọ bụrụ nandị niile nọ ebe a na-akọ akụkọ ifo ma sonyen’igere akụkọ ifo ahụ bụcha ndị ogee.

Ndị ogee bụ ha na-azaso ọkọọ, oge ọbụla e nwere ihe aga aza. Ọ bụrụ n’ifo ndị nwere abụ maọbụ agụ ekwe, ọ bụ ndị ogee na-abụ ya maọbụ na-ekwe ya. Ndị ogee nwere ike igosi mmasị ha n’akụkọ ahụ site n’ịkụ akamaọbụ ikwe n’isi. Ha nwekwara ike igosi mwute n’akụkọ ana-akọ site n’otu ha ga-esi wee dobe ihu ha; maọbụrụ n’akụkọ ahụ metụtara ihe dịka mmegbu, ọnwụ maọbụ ihe yiri ha. N’ihinke a, e nwere ike ịsị na ha bụkwandị ọkọọ n’ụzọ pụrụ iche. N’ihi na e wepụ ndị ogee, ọrụ ọkọọ agaghị enwe isi. E nwekwara ike ịsị na ọbụrụ na-enweghị ndị ogee; agaghị enweemereme akụkọ ifodịkaosi wee kwesị n’usoroebimndụ ndị Igbo. Emebereakụkọ ifoka ọ bụrụ ihe a gana-akọ akọ; emebeghị yaka ọ bụrụ ihe a gana-agụpụta. N’agbanyeghị na-enweelaọtụtụ akwụkwọ ebe achịkọ bara akụkọ ifo Igbo ndị gụnyerendị a: *Nwaada Lọọlọ, Ọmalịnze, Éké na Égwùrùgwù, Nza na Obu, Ọka Mgba, Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwsịrị KaỤmụ Mmadụ Mara,* dgz. Akwụkwọ ndị a emeghịka ọnọdụ akụkọ ifo Igbo dịka agụmagụ ọnụ gbanwe. N’ihinke a, mmemme akụkọ ifo zuru oke bụ nke e nwere ọkọọ ma nwekwa ogee maọbụ ndị ogee.

Ndị ogee na-aza ajụjụ ọkọọ na-ajụ na ngwụcha akụkọ. Ha nwekwara ike ịjụ ọkọọ ajụjụ n’ebe ha nwere mgbagwoju anya.

**NNWALE ONWE**

1. I chere na ndị ogee ifo ga-abụrịrị ụmụaka?
2. Kedụ etu ndị na-ege ifo si esonye n’ihe a na-eme?

## 4.0 MMECHI

Ndị ogee bụ ndị na-anọdụ gere akụkọ ọkọo.̣ Ọ bụkwa ha na-aza ajụjụ ọkọọ chọrọ ka a azaa. Ndị ogee na-esonyekwara ọkọọ n’abụ na ukwe dị n’ifo makana ọtụtụ ifo ndị nwere abụ maọbụ agụekwe n’ime ha. Ndị ogee dị oke mkpa na mmemme akụkọ ifo ndị Igbo.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, elebara anya na ndị bụ ndịogee/onyeogee n’akụkọ ifo Igbo; tinyekwara ọru ̣ha n’arụ na uru ha bara n’akụkọ ifo Igbo.

## 6.0 IHE OMUME

1. Kedụ onye bụOnye ogee/Ndị Ogee?
2. Kedụ uru ndị ogee n’ebe akụkọ ifo dị?

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition*. Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. Ph.D Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Mba, B. M. and Mba, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo: Igbo Oral Literature*. Onitsha: Africana Publishers.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Nigeria: Africana First.

Thompson, S. (ed.) (1977). *The Folktale*. Berkeley: University of California Press Ltd.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# YUNIT 4 NZIPUTA EKEREUCHE ONWE N'IFO DỊKA NCHETA ỌKỌAKỤKỌ

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Nzipụtaekereucheonwe n'ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Iheomume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo bụ udị akụkọsitere n'ekereuche mmadụ nke a na-esite na ya wee gosipụta ọtụtụ ihe na-eme na ndụ ndị Igbo ma kuzikwa ihe. A ga-elebazi anya n'uju otu ekereuche si agba elu n'ifo Igbo.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit iheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- kọwapụta ka akụkọ ifo igbo siri bụrụ ọrụ aka ekereuche
- gosipụta ka ọkọo ṣi enweta ihe ndị na-emejupụta akụkọ ya.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Nzipụta Ekereuche Onwe n'Ifo Dịka Nchepụta Ọkọakụkọ

Akụkọ ifo bụ akụkọ ekereuche; ọ bụ akụkọ na-emeghi eme nke eji egosipụta omenala, nkwenye na usoro ebimndụ ndị Igbo. Akụkọ ifo abụghị akụkọ e nwere ike isi n'akwụkwọ wee mepụta ihe dị n'ime ya. Ọ bụ akụkọ gbadoro ụkwụ na ụwa nrọ; n'ihi nke a ọ bụ oke na ọrụ dịrị ọkọakụkọ isi n'ihe ndị na-eme n'ụwa maọbụ ihe ndị ọhụrụ maọbụ nke o ṇụrụ were site n'ekereuche ya wee mepụta ha n'ụdị akụkọ.

Ọkọọ na-esite n'ekereuche ya webata ụdị agwa dị icheiche ndi na-ewerecha ọnọdụ mmadụ; na-agbanyeghị na ha bụ mmadụ maọbụ na ha abụghị. Ọ ga-ewebata agwa ndị a n'ụdị ha ga adaba nkeọma iji mee ka akụko ya daba adaba n'usoro okwesịrị. Iwebata agwa n'ụzọ dabara na-ewulite mmụọ ụmụaka, mee ka ha nwee mmasi na anụmọkụ wee nwee ike ịnọrọ nụrụ ifo ndị ahụ.

Akụkọ ifo abụghị ihe mmadụ na-eńomite n'aka onye ọzọ; kama mmadụ nwere ike izulitekwu onwe ya na nka akụkọ. Oge ụfọdụ inwe nka n'akụkọ ifo na-abụkwa ọ natarachi. O nwere ndị nwere ụdị nka dị otu a karịa ndị ọzọ.

Mmadu ịbụ onye anya ruru ala na onye na-etinye anya n'ihe ndi na-eme n'okiriki ya bakwara uru n'ebe imeputa akụkọ ifo di. N'ihi n'ihe na-emejupụta akụkọ ifo bụ ọtụtụ ihe na-eme na ndụ mmadụ maọbụ ihe ndị merela na ndụ mmadụ.

**NNWALE ONWE**

- Kedụ ụzọ ọkọakụkọ ifo si egosipụta ekereuuche ya na nkà akụkọ ya?

## 4.0 MMECHI

Na mmechi, akụkọ ifo bu ihe gbakwasịrị ụkwụ n'ekereuche. Ekereuche a na-agba elu n'ụdị akụkọ dị n'ifo, usoro nhazi akụkọ, ụdị agwa dị n'ifo ma tinyekwara emereme dị n'ifo.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, ifo bụ ọrụ ekeruche onye; ewepụ ekeruche agaghị enwe ifo. N'agbanyeghịkwa n'ifo bụ ọrụ ekereuche, ọ bara nnukwu uru na ndụ ndị Igbo.

## 6.0 IHE OMUME

Ekereuche, bụ isi ahụrụ kwaba okpu n'ifo. Tụlee nke a

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition*. Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. Ph.D Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Mba, B. M. and Mba, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo: Igbo Oral Literature*. Onitsha: Africana Publishers.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Nigeria: Africana First.

Thompson, S. (ed.) (1977). *The Folktale*.Berkeley: University of California Press Ltd.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# MODUL 4 ỌDỊDỊ IFO


Yunit 1 Nhazi akụkọ n’Ifo (ịma atu, abụàguèkwe dị n’akụkọ ifo Igbo)
Yunit 2 Nkà Akọmakọ Ifo
Yunit 3 Àgwà na Nzipụta agwa n’Ifo Igbo
Yunit 4 Asụsụ n’Akụkọ Ifo


## YUNIT 1 NHAZI AKỤKỌ N’IFO

### NDỊNA


1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna Kpọmkwem
3.1 Nhaziakụkọ n’Ifo
3.1.2 AkụkọIfo na Abụ (àguèkwe)
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi


## 1.0 MKPỌLITE

Akụkọ ifo nwegasịrị usoro esi ahazi ya ka owe nye ihe achọrọ. Dịka e kwurula, asụsụ eji akọ ya na-adị mfe. Usoro esi ahazị akụkọ ahụ n’onwe ya bụ nke na-aga sịrịrị werere ka ụmụaka wee nwee ike isonye nkeọma, maghọtakwa ihe akụkọ na-ekwu. Ọzọkwa, a na-enwe usoro esi amalite ma na-emechikwa ya. Na yunit a, a ga-elebanye anya n’ụfọdụ ụzọ esi ahazi ifo na ụfọdụ ihe ndị na-agba elu n’ifo.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit iheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- kọwapụta usoro a na-agbaso n’ihaziakuko ifo
- gosipụta ihe ndị e nwere ike ilekwasị anya n’ịhazị akụkọ ifo
- kọwaa ihe kpatara e ji ahazị akụkọ ifo n’usoro ndị ahụ.

# 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

## 3.1 Nhazi Akụkọ n'Ifo

Akụkọ ifo na-adị nkenke, adị mfe karịa ka a na-enwe n'agụmagụ ndị ọzọ. Emereme na-enwe usoro a na-agbaso wee na-akọ ya; o nwere ihe ndị a na-elekwasị anya ma ana- efo ifo. A na-enwekarị njem, nke isiagwa na-esikarị naya achọpụta ihe gbasara onwe ya. A na-enwekarị kwunkwukwa nke na-enyekarịrị ọkọọ aka icheta ihe. Emereme na-aga werewere na ọsịịsọ ọsịịsọ. Ngwụsị akụkọ na-ewetakarị obiụtọ na ihe mmụta.

Dịka e kwurula ndị akachasị buru n'uche wee na-akọ akụkọ ifo bụ ụmụaka, n'ihi ya a na-akwa nka n'ime akụkọ ifo. Nke mbụ bụ ihe arụtụrụla aka nke bụ asụsụ e ji efo ifo. Asụsụ e ji efo ifo bụ asụsụ dị mfe nke ga-edo ewu na ọkụkọ anya. A na-agbalisi ike ịhụ na anaghị ewebata akpalaokwu, ilu na atụmatụ okwu ndị ọzọ. Nke a apụtghị na ha anaghị adị n'akụkọ ifo; kama na-anagbalisike ịhụ na ha dị mpe.

Nhaziakụkọ ifo bụkwa ihe na-aga sịrịrị werere; anaghịesi na nkụefere n'ụkwa na nhaziakụkọ ifo.

Dịka arụtụrụla aka, a na-enwe usoro mmalite na usoro mmechi. Akụkọ ndị na-adị n'ifo na-agakwa n'usoro n'usoro. Ọ naghị abụ akọkata maka Okeke; akọba maka Okafo, ka ụmụaka ghara inwe mgbagwoju anya kama ha ga-enweike ịghọta akụkọ ahụ nkeọma.

Na nhaziakụkọ ifo, ọkọọ na-ebu ụdị ndị ọ na-eforo ifo n'obi. N'ihi nke a, o nwere ike ịgbanwe agwa, aha agwa maọbụ gbanwee ebe emerememe dị n'ifo ya, ka ndị ọ na-eforo ifo wee nwee ike isonye nkeọma n'ifo.Ụdịrị mgbanwe naa-dị n'ifo gosịrị na ọ bụ ụmụaka nwe ifo. A na-etinye mgbanwe n'ifo ka e wee foo ya n'ụdịrị ọ ga-ekwe ụmụaka ghọta, ma wepụkwa ọtụtụ ihe ụmụaka etosịghị ịnụ. Onye na-eforo nwa dinta ifo nwere ike were dinta kpara ike maọbụ nwa ya mere onye isiagwa n'ifo ahụ iji wee gosị nwa dinta ahụ n'ọrụ dinta bụ ezigbo ọrụ nakwa na nwa dinta tosịrị ị na-akpa ike.

Onye na-eforo ụmụagbọghọ n'eto eto ifo nwere ike webata mgbanwe ụfọdụ iji gosị ha na ọ dịghị mma ịgba nhọ dị. Ọ dịghịkwa mma ịgba asirị maọbụ ịgba akwụnakwụna (ashawo). Ọ bụrụ ụmụnwoke na-eto eto ka a na-eforo ifo ahụ, a na-eme ka ha mata na irubere nne na nna ha isi ga-ewetara ha iheọma n'ọdịnihu. E nwekwara ike iforo ha ifo ga-akuziri ha na isogharị ụmụnwaanyị adịghị mma.

Ihe ndị ọzọ na-agbakwa elu na nhazị ifo bụ abụ maọbụ agụekwe dị n'ifo. A aga-elebazi anya na ndi a na yunit 3.1.2

**NNWALE ONWE**

Họrọ otu ifo Igbo masịrị gị n'akwụkwọ ndị e depụtaara gị, gụọ, tulee nhaziakụkọ ya.

## 3.1.2 Akụkọ Ifo Na Abụ (Agụekwe)

Abụ (agụekwe)dị nnukwu mkpa n'ifo Igbo n'ihi na okenye ọbụla nwere ike ige ntị nkeọma nụrụchaa akụkọ ifo ekwemekwe/abụ adịghị. Ọtụtụ mgbe, akụkọ na-aka amasị ndịokenye ma ekwemekwe adịghị ya. Nke a adịghị etu a n'ebe ụmụaka nọ, n'ihi n'ekwemekwe/abụ na-enye ụmụaka obi aṅụrị. Ụmụaka na-esi n'egwu/uri a na-agụrụ ha na-ato ha ụtọ wee mụrụ ihe a na-achọ ịkụziri ha na-agwaghị ha agwa. Egwu/uri na ekwemekwe dị n'ifo na-emekwa ka ụra ghara ịtụ ụmụaka mgbe a na-eforo ha ifo. Ọtụtụ n'ime ha na-eje n'ebe a na-efo ifo naanị maka ekwemekwe dị na ya. Ekwemekwe jupụtara n'ifo Igbo nke a gosịrị n'ifo kara bụrụ maka ụmụaka.

Ọkọọ akụkọ kwesịrị ilezi anya nkeọma mara ebe abụ maọbụ agụekwe kwesịrị ịbata n'ifo ya. Agụ ekwe na abụ bụ otu n'ime njirimara akụkọ ifo Igbo.Ọkọakụkọ na-eme ka ndị na-ege ya ntị soro ya kọọ akụkọ site n'ime ihe ruru ha n'aka, dịka ikwu ihe ọ sịrị ha kwuo maọbụ kwee. N'ihi na ha abụghị arụsị a pịrị apị. Mgbe ha na-akọ akụkọ, ha na-enwe mkparịtaụka na ụmụ ihe ndi ọzọ dịka ịkụ aka, ịchị ọchị, igosị mwute. Abụ maọbụ ukwe nwere oru ha na-aru n'ifo. Nke mbu, Abụ maọbụ ukwe ndị a na-eme ka ụmụaka ghara ihi ụra tinyekwara, mụrụ anya wee ruo n'akụkọ agwụ.

Ọzọkwa, abụ maọbụ ukwena-enye aka ka akọ na uche ụmụaka ghara ịkpafu ma ọ bụrụ na akụkọ etobe ogologo. N'ihi nke a ọ bụ oke naọrụ dịrị ọkọọ ịmata oge o kwesịrị ịwebata abụ maọbụ ukwe n'ifo ya. N'akụkọ ifo ụfọdụ abụ maọbụ ukwe na-enyekwa aka igosipụta ọnọdụ ime mmụọ agwa dị n'ifo. Ihe ndị a niile bụcha ihe ọkọọ gaa-etinye n'uche n'ịhazi akụkọ ya. Ọmụmaatụ:

**Agụ na Ndị Inyom Ya**

O ruru otu mgbe ahụ, agụ wee na-alụ ndị inyom atọ. Ọ hụrụ abụọ n'ime ha n'anya kpọọkwa otu asị. Ọ bụ naanị abụọ ahụ ọ hụrụ n'anya ka ọ na-enye ihe dum ọ kpatara n'ụzọ. Ọ dịghị enye nke ahụ ọ kpọrọ asị n'ihi na ihe ya na-ewe ya iwe nke ukwu. Ọ dịghị achọ iji anya ya abụọ ahụ ya. Agụ na ezi na ụlọ ya nwere otu enyi ihe na-adabara ha na ya nke ọma. Aha enyi ha ahụ bụ Mbe. Mgbe ọbụla ọ bịara n'ụlọ enyi ya nwoke hụ ihe ọ na-eme nke ahụ ọ kpọrọ asị obi adịghị adị ya mma. Kwa ụbọchị, mgbe ọ bụla ha na-akparịta ụka, Mbe ana-akọwara enyi ya na ọ dịghị mma ịkpọ nwanyị asị n'efu, n'ihi na ọgaranya adịghị ama nwanyị hụrụ ya n'anya n'ezie ruo mgbe ego ya gwụrụ ma ọ bụ ọ nọọrọ na mkpa.

N'ihi nke a ha kara ụbochị ha ga-amara n'ime ndị nwunye ya ato ahụ, onye hụrụya n'anya n'ezie, marakwa nke bụ nkwụ ọ gba n'ihu diochi. Ya mere n'ụtụtụ ụbọchị ahụ a kara aka, Agụ kpọrọ ndị inyom ya atọ ahụ, gwa ha na ya ga-aga ọgụ siri ike, na ya amaghị nke ọma na ya ga-alatakwọ. Ọ gwara ha na ọ bụrụ na a hụghị ya wee ruo n'uhuruchi ka ha mara na agha eriela ya. Mgbe ọ gwasịrị ha otu a, o keere ihe dum o ji ebu agha, were si n'ụlọ pụwa. Ndị inyom ya na ụmụ ha wee chee na ọ bụ agha ka ọ gawara n'ezie, ha amaghị na ọ bụ ọnwụnwa ka di ha chọrọ ịnwa ha. Ka agụ pụọrọ ọ gawara n'ụlọ enyi ya nwoke. Ka ha tasịara ọjị enyi ya nyere ya, ọ kpọọrọ Mbe gawa nta n'etiti oke ọhịa. Ha nọrọ n'ime ọhịa ogologo ụbọchị ahụ niile, na-adọgbu ọtụtụ ụmụ anụmanụ. N'oge uhuruchi, ha bukọrọ ha dum laghachi n'ụlọ Mbe. N'ebe ahụ ha siri ụfọdụ n'ọkụ rijuo afọ ha, ṅụọkwa mmanya enyi ya nwoke debere n'ụlọ. Tutu ha emesịa ihe ndị a chi ejimiela. Mgbe ha maara na ndị mmadụ arahụsịwo ụra, Mbe sịri ya na ha ga-aga n'ụlọ ya ka ha marazie n'ime ụmụ nwanyị atọ ahụ nke hụrụ ya n'anya n'ezie.

Ka ha na-erute ụlọ Agụ nso, Mbe gwara ya ka ọ ghara ikwu okwu ọbụla, maọbụ ịkwa ụkwara, ma ọ bụ ize uzere, maka ọ na-egere ntị ihe ya na ndị inyom ya ga-ekwu. Mgbe ha rutere n'ama Agụ n'etiti abalị, ha buuru ụzọ gaa n'ọnụ ụzọ isi nwanyị ya. Mgbe Mbe suoro aka n'ụzọ, o biliri n'ụra, wee jụọ ya sị:

| | |
|---|---|
| Ọ̀ bụ̀ onyē nà-èsu n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ọ bụ̀ enyī gị mbè o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ànyị jèrè agha o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì ònye ò? | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì agụ̄ ò | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |

Isi nwạnyị ya wee mụọ amụ sị ya:

| | |
|---|---|
| Ya ntọ̀ọọ̄ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Kà ụmụ̀ anụmànụ̀ kpāra nrī | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ijiji gaa n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agụ̄ aghọchara yā | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Òdùdù gaa n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agụ àghọchara yā | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ya ntọ̀ọọ̄ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ka ụmụ̀ anụmànụ̀ kpara nrī | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |

Ihe a o kwuru wutere Agụ nke ukwu, n'ihi na ọ bụ isi nwanyị a ka ọ hụkarịsịrị n'anya. Ọ bụkwa ya ka ọ na-emekarịsịrị ihe mgbe niile. Ka Agụ chọpụtara na ọ hụghị ya n'anya, o siri n'aja kwụfere bakuru ya dọgbuo ya n'ekweghị ya sụpụ ude ọbụla. Mgbe nke a gasịrị ha gakwara n'ọnụ ụzọ nke na-eso isi nwanyị, Mbe sụkwa aka n'ụzọ nwanyị ahụ zakwara sị:

| | |
|---|---|
| Ọ̀ bụ̀ onyē nà-èsu n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ọ bụ̀ enyī gị mbè o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ànyị jèrè agha o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì ònye ò? | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì agụ̄ ò | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| O wee mụọkwa amụ nke ya sị: | |
| Ya m m̀ e e | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Kà ụmụ̀ anụmànụ̀ kpāra nrī | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ijiji gaa n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agụ̄ aghọchara yā | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Òdùdù gaa n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agụ àghọchara yā | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ya m m̀ e e | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ka ụmụ̀ anụmànụ̀ kpara nrī | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |

Mgbe Agụ nụkwara ǹke à, ọ kwụfekuuru ya dọgbuokwa ya, ka o mere isi nwanyị ya tutu ha agawa n'ọnụ ụzọ nwanyị nke ọ kpọrọ asị. Mgbe e suoro ya aka n'ụzọ ọ sịrị:

| | |
|---|---|
| Ọ̀ bụ̀ onyē nà-èsu n'ụzọ̀ | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ọ bụ̀ enyī gị mbè o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ànyị jèrè agha o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì ònye ò? | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Agha rìrì agụ̄ ò | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ka ọ nụrụ ihe a, o wutere ya nke ukwu, o wee kwaa akwa sị: | |
| Ewò! Ewò! di m̄ o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Chi m̄ ègbuo m̄ o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Yà dịrị ndụ̀ o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Mà ya mègbube m̄ o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ewò! Ewò! di m o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |
| Ya làa mmā o | *M̀gbàfịrị kọ̀tọ̀ọ̀, m̀gbà m̀gbà*! |

Akwa a ọ kwara wee metụ Agụ n'obi nke ukwu, n'ihi na ọmaghị na ọ bụ onye ya kpọrọ asị ga-akwa ya ma ya nwụọ. Site n'ụbọchị ahụ Agụ malitere hụ ya n'anya kpọkwa ya nwunye ya. Ọ bụzi naanị ya ka ọ na-ebukọtara ihe dum n'ihi na ndị ọzọ anwụọla.

**Ihe Mmụta**

Akụkọ a na-egosị na ịkpọ nwanyị asị n'efu adịghị mma. Ọ na-adụ nwoke ọbụla ọdụ ka ọ ghara ịsị na nwanyị ọbụla ahụka ya n'anya wee ruo mgbe akụ ya gwụrụ maọbụ mgbe o nwere mkpa (Emenanjo(1977), *Ọmalinze*).

Ọ bụrụ na i lee anya n'ifo a dị n'elu, ị ga-ahụta na o nwere agu-ekwe, nke a pụtara na ọ bụrụ ọkọọ akụgịde akụkọ rute n'ebe ekwemekwe ndị a dị, ọ ga-agwa ndị ogee ihe ha ga na-ekweso ya.

**NNWALE ONWE**

1. Were ọmụmaatụ anọ gọsịpụta ifo nwere ndokọ agụekwe.

## 4.0 MMECHI

N'iheọmụmụ a, elebara anya etuọkọọ nwere ike isi hazie ifo ya ka o wee nye ihe a chọrọ. E lebakwara anya otu agụ-ekwe na abụ si agba elu n'akụkọ ifo Igbo na ọrụ ha na-arụ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, n'ihi oke mkpa agụ-ekwe na abụ dị n'ifo Igbo, ọ dị mkpa ị na-ewebata ha n'akụkọ ifo ọbụla ha gbara elu oge ọbụla a na-efo ifo ndị ahụ. Ndị nchịkọta akụkọ ifo ga-agbalisikwa ike na-achịkọtakwa ha oge ha na-achịkọta akụkọ ifo, ka ha ghara ịbụ ihe furu efu.

## 6.0 IHE OMUME

Were ifo abụọ si n'akwụkwọ ifo abụọ ị gụrụla nyochaa nhaziakụkọ ha n'uju.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University.

# YUNIT 2 NKÀ AKỌMAKỌ IFO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọmkwem
3.1 Nka akọmakọ ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Iheomume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit a, a ga-elebanye anya na nka akọmakọ a na-enwe n'ifo Igbo na etu ọ na-esi akwalite akụkọ na nsonye ndịogentị.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụ a, i ga-enweike:

- gosipụta nka akọmakọ dị icheiche a na-ahụ n'ifo Igbo
- kọwaa urụ nka akọmakọ bara n'akụkọ ifo Igbo
- gosipụta etunka akọmakọ si akwalite akụkọ ifo.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Nkà Akọmakọ Ifo

Ifo bụ ekwurunọnụ. Ọkọọ na-akọ ka onye nọ na-ekiri ewereme agwa ndị e nwere. Akụko ifo bụ akụkọ chọrọ nnukwu nka. Ọ bụghị ihe mmadụ na-amabanye n'ime ya n'ebughi ụzọ kwadoo onwe ya nke ọma. Ọ bụ ọrụ dịrị ọkọọ ịhọpụta isiokwu dabara adaba. Ihe ga-enyere ya aka n'ime nke a bụ ibu ụzọ mata ụdị ndị mejupụtara ndị ogee ya. N'ihi na ịhọrọ isiokwu, tinyekwara ịhọrọ agwa ndị ga-adị n'akụkọ ya ga-agbado ụkwụ n'ụdị ndị ogee onwere.

Ohere anaghị adịkebe itinye okwu nke aka ya. Ọkọọ nwere ike iwebata mgbanwo n'olu akụkọ ya. Ọ masị ọkọọ, o nwere ike iji onye nke mbụ (kaesirihu). Ụzọ akọmakọ ya na-adị ekelesu (direct) na-ebutekwa mmekọrịta. Ọkọọ na-akọrọ ndịogentị akụkọ ihu na ihu, na-agbakwa mbọ iji okwu (asụsụ) nke ya agwa ha. Ndịogentị ọkọọ na-akọrọ akụkọ na-esonye n'akụkọ. Ha anaghị agba nkịtị.

Ihe ndị ọzọ na-akwalite nka akọmakọ bụ iwebata n'akụkọ ihe dịka mmiri asaa, ọhịa asaa, iwebata ọrụ ọgwụ maọbụ anwansị, izute ụmụanụ enyemaka maọbụ ihe na-eyi egwu, itinye aka n'ihe apụghị omume, ihe tara akpu, ime nkwekọrịta gosiri nzuzu, ime nghọgbu, dgz. Ihe niile ndi a na-akwalite obinkonelu na mmasị ndịogentị.

**AJỤJỤ NNWALE**

1. Ọ bụ gịnị mere na ọkọakụkọ ifo anaghi enwe ohere itinye okwu nke aka ya mgbe ọ na-akọ akụkọ ya?
2. Kedụ mere ọkọ akụkọ ji ewebatakarị ihe dịka mmiri asaa, ugwu asaa n'akụkọ ya?

## 4.0 MMECHI

Akụkọ ifo nwere ọtụtụ ihe a tụrụanya na-aka ọkọọ, tupu akụkọ ya ga-eji enye ihe a chọrọ. Ihe ndị ahụ a tụrụ anya n'aka ọkọọ na akụkọ ya bụ ihe ndịelebara anya na yunit a.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, nkà dị nnukwu mkpa tupu enweta ihe niile a chọrọ n'akụkọ ifo.

## 6.0 IHE OMUME

Nkà bụ otu n'ime ihe ọkọọ kwesịrị ibu n'uche tupu o malite ịkọ akụkọ ifo. Tulee nke a.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann.

Anyachebelu, A. L. (2017). Ọnọdụ Akụkọ Ifo N'Oge Ugbu a. *Igede Igbo: A Journal of Igbo Studies*. Vol. 3 (1), 100-112.

Anyachebelu, A. L. (2016). Retrieving the Pearls of the Past: An Adaptation of Igbo Folk-Narrative Strategies into Video Film. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*. Vol. 1, (1). 170-190.

Anyachebelu, A. L. (2017). Ọnọdụ Akụkọ Ifo N'Oge Ugbu a. *Igede Igbo: A Journal of Igbo Studies*. Vol. 3 (1), 100-112.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales*. Ibadan: Oxford University Press.

Ikwubuzo, Iwu (2008). Igbo Oral Literature and the Igbo Youths Today: What Literary Legacy for Posterity, in I. Ikwubuzo, C. Ohiri-Aniche & C. Nnabuihe (Eds.) *Udezuluigbo: A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu*. Lagos: Green Olive Publishers, 39-56.

Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.

Iwe, A. (1963). *Akụkọ Ifo Ụfọdụ Kwesịrị Ka Ụmụ Mmadụ Mara*. Lagos: Katz & FodorAcademy.

Nnabuihe, C.B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifondị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nnyigide, M. N. and Okoye A. N. (2016). "Igbo Folktales and Igbo Youths Development: The Need for Revitalization of Igbo Folktales". In *Mgbakoigba, Journal of African Studies.* Vol. 6 (1).

Ogbalu, F. C. (1973). *Nza na Obu.*Onitsha: University Publishing Co.

Ogbalu, F. C. (1966). *Mbediọgụ.* Onitsha: University Publishing Company.

# YUNIT 3 NNYOCHA AGWA NA NZIPUTA ÀGWÀ N'IFO IGBO

**NDỊNA**

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna Kpọmkwem
3.1 Agwa n'Ifo
3.2 Agwa Mbe n'Ifo Igbo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit a, a ga-elebanye anya n'ụdị agwa dị icheiche na-agbaelu n'ifo Igbo. A ga-eleba agwa ndị a anya n'ụzọ abụọ- agwa Mbe na agwa ndị ọzọ.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunitiheọmụmụ a, ị ga-enweike:

- gosipụta agwa dị icheiche a na-ahụta n'ifo Igbo
- kọwaa ọrụ agwa ndị ahụ na-arụ n'ifo Igbo
- gosipụta agwa kachasị agbaelu n'ifo Igbo n'ihe kpatara ya.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Agwa N'ifo

Ụfọdụ ihe ndị anyị nwere ike ịkpọ njirimara agwa a na-ahụ n'ifo:

1. Agwa na-adịkarị rarịị, dị mfe; a naghị egosipụta ha n'ụzọ gbagwojuru anya. Ha na-abụ ndị ezi omume maọbụ ajọ omume ha na-agba elu nke a na-eji ama ha ọsịịsọ, Nye ọmụmaatụ site n'ifo Igbo ị gụrụla.
2 Ihe na-akpalikarị mmụọ agwa ime ihe na-abụkarị ihe ọ chọkarịchara na ndụ ya. Mkpalimmụọ ya nwere ike ịbụ anyaukwu, ịhụnanya, egwu/ụjọ, ekworo.
3. Agwa a na-enwe n'ifo na-abụkarị ndị e eji otu ihe mara (stereotypical). Ịma atụ, ajọ nwunyedi, ajọ nwaanyị nọchiri anya nne mmadụ, onye aghụghọ, onye anyaukwu, dịka mbe, ụmụnne na-ekwosa onwe ha ekworo, enyi kwesịrị ntụkwasịobi.

Isi n'etu agwa dị/etu e si kọwapụta ahụ ya ma e lee ya anya mara ụdị onye o nwere ike ịbụ mana a na-enwekwa agwa ịzo ihe ọ bụ n'ezie.

4. Odogwu (nwoke maọbụ nwaanyị) bụ onye a na-ezipụtakarị naanị ya' Odogwu a na-enweta enyemaka mmụọ.

A na-enyekarị ya onyinye nwere ike inyere ya aka iluso ajọ mmụọ ndị na-ebu ya agha maọbụ adọghachị ya azụ.

Dịka ekwurula, e nwere agwa ndị dị n'ifo a kpọrọ aha, nwee agwa ndị akpọghị aha.

Agwa ndị a kpọghị aha na-abụ ụdịrị agwa a na-asị "otu nwoke", "otu nwaanyị", "otu onye eze", "otu agadi nwaanyị", dgz. Ọmụmaatụ: *Nza na Obu,* ihuakw. 14; 33; *Ọka Mgba,* ihuakw. 7 "Otu Nwaagbọghọ", ihuakw. 1 "Otu nwaanyị".

Agwa ọzọ bụ agwa rarịị. Agwa rarịị bụ agwa nwere otu ihe e ji mara ya. Ọ na-abụ efoo ifo, o mee otu ihe, efookwa ifo ọzọ, ọ mekwa otu ihe ahụ.

Ọtụtụ agwa ndị ọzọ kwa a na-ahụ n'ifo bụ agwa ndị a maara amara. Ụfọdụ agwa ndị a bụ dimgba, nwaanyị àgà, nwunyedi, nwunye nna, dinta, dgz. Ihe dịka dimgba na-abụ onye ga-agbarịrị mgba ruo n'ala mmụọ. Nwaanyị àgà anaghị amụta nwa, ọ ga-abụ onye a na-emegbu emegbu. Ọ ga-etinye ihe niile o nwere iji mụta nwa. Nwunyedina-abụkarị onye na-ekwo ekworo, onye na-emesi nwunye di ya ike maọbụ gbuo ụmụ nwunye di ya. Ọmụmaatụ: *Ọka Mgba,* ihuakw.107, dgz.

## 3.2 Agwa Mbe n'Ifo Igbo

Agwa na-akacha agba elu n'ifo Igbo bụ Mbe maka na efobe ifo efonyeghị Mbe, ị mara n'ifo ebidobeghị. N'ihi na Mbe bụ agwa chịkọtara ọtụtụ ihe e jirimara ndị Igbo, ma ndị ọma, ma ndị ọjọọ. Mgbe mmadụ na-aghọ oke aghụghọ, a na-asị na onye ahụ bụ Mbe. N'ezie, nzipụta agwa Mbe n'ifo Igbo bụ iwepụta ya dịka onye dị oke aghụghọ. Ma ọ bụghịkwa naanị aghụghọ bụ njirimara Mbe n'ifo Igbo; e nwekwaraagwara ndị ọzọ e jiri marakwa Mbe.A ga-eleba ha anya n'otu otu n'ebe a.

**1. Amamihe**

N'ọtụtụ ifo, a ga-ahụ ebe Mbe gosịrị amamihe dị ịtụnanya. Mbe gosịpụtara amamihe ya n'ebe ụmụmmadụ, ụmụmmụọ, ụmụanụmanụ nakwa n'ebe Chukwu n'onwe ya nọ N'ifo gbasara "Mbe na Chukwu". N'ifo ahụ, ọ dịka aga-asị na Mbe meriri chukwu n'ịsọmpi amamihe site na-imezu ihe niile tara akpụ

Chukwu sịrị ya mee. Nke a pụtara ihe n'ifo dị n'akwụkwọ *Mbediọgụ* ia. 1 "Mbe na Chukwu"

**2. Ịbọ Ụbọ**

Ọtụtụ ifo gosịpụtakwara Mbe dịka onye na-emegwara mmadụ ihe ọbụla o mere ya. N'akụkọ "Mbe na Ngwere" nke dị n'akwụkwọ *Mbediọgụ* Mbe gbubiri ọdụ Ngwere n'ihi na Ngwere gbubiri akpa nnu o bu n'azụ.

**3. Anyaukwu**

Mbe nwere anyaukwu karịa. Ọ naghị achọ ka onye ọzọ nwee ihe karịa ya. Ọ naghị achọkwa ka onye ọzọ nwee otito karịa ya. Ọ na-afụ ya ụfụ ma ihe ọma dabaara mmadụ/anumanụ ibe ya Ọtụtụ mgbe, ọ na-achọ ka nanị ya bukọrọcha ihe dịịrị ya na onye ọzọ; nke aka ya adịghi na ya ma ncha. Iji maatụ: n'akụkọ "Mbe na ụmụ atanị", Mbe chọrọ iji anyaukwu, bukọrọ anụ ele ụŋụ atanị kụgburu. Nke a dị n'akwụkwọ *Nza na Obu*

A ga-ahụkwa ọmụmụaatụ ọzọ n'*Ọmalịnze* (ih.akw. 108) ebe Mbe were anyaukwu na-ebukọrọ nri agadi nwaanyị meere ya ọgọ.

**4. Oke Ọchịchọ**

Mbe na-achọkarị ka o nwetachaa ihe niile anya ya hụrụ. Ọtụtụ mgbe, ọ na-echefu na onye chọba ka ya ghọtachaa ihe niile ụkpaka ya mịrị, ọ gaghị esi ebe o si rịa elu, rịdaa. Iji maa atụ *Mbediọgụ* ia. 59 "Mbe na Ududo"; akụkọ Eke Mbe Agana Esu nke dị n'*Ọmalịnze*.

**5. Nzuzu**

A sịrị na onye ọbụla chere na ya mazuru ihe niile, onye ahụ bụ onye nzuzu. Ọtụtụ mgbe, Mbe na-achọ ịgosị na naanị ya bụ onye amamihe, mgbe dị otu a, amamihe ya na-aghọ ya ahịa, bịa mezie ya onye nzuzu n'anya ndị mmadụ.

N'ifo gbasara "Mbe na ụmụnnụnụ" nke dị n'*Mbediọgụ*, Mbe gosịrị nzuzu ya site n'ịchọ ka ya saghe ọnụ gwa ndị mmadụ na ọ bụ ya tụpụtaara ụmụnnụnụ aro, ebe ọ maara na ọ bụ otu ọnụ ahụka o jiri tado osisi ụmụnnụnụ jiri buru ya. Ọmụmaatụ ọzọ dị n'*Mbediọgụ*, "Mbe na Ọgbụgba Amamihe"

**6. Ajọ Obi**

Mbe abụghị nwanne mmadụ. Ọ bụghị enyi onye ọbụla. O nwere ike imefu enyi ya maọbụ nwanne ya iji nweta ihe ọ chọrọ. Na mmadụ meere ya ihe ọma apụghị ime ka ọ ghara ịchọ ihe ọ ga-eji megide onye ahụ maọbụ nwanne ya. Ọ ga-achọrịrị ụzọ isi mefuo onye ahụ maọbụ nọchiere ya ụzọ inweta ihe ọ chọrọ. Iji maatụ: *Ọmalịnze* ia. 108; *Nza na Obu* ia. 19; *Mbediọgụ* ia. 15 'Mbe na Ejula' mgbe ha na-aghọ mgbo ịlu Adaeze; *Mbediọgụ* 56.

**7. Asịrị**

Mbe bụ onye asịrị. Akaọrụ ya bụi soro mmụọ gbuo mmadụ, soro mmadụbịa mgbaru. Ọ banye n'ọhịa gbuo, ọ pụta n'ụzọ jụba ònyé

gburu? Mbe gbara ọtụtụ ụmụanụmanụ mgba okpuru (betrayal) mgbe ya na ha mekọrọ ihe. Chọpụta ọmụmaatụ n'akwụkwọ ndị e wepụtara gị iji wee mụọ ihe.

**8. Akpịrị Ogologo**

Ọtụtụ mgbe a na-ahụ etu Mbe siri tinye onwe ya na nsogbu n'ihi akpịrị ogolgoo ya. ihe ọbụla anya ya hụrụ, ọ ga-achọrịrị ka o rie ya, ma ọ bụ nke ya ma ọ bụghị, ma ọ ga-egbu ya egbu ma ọ gaghị. Ọmụmaatụ: *Mbediọgụ* ia. 27, akpịrị ogologo Mbe mere ka ọlaghachi azụ n'ala mmụọ ịchọịgba nri ọzọ mgbe nwunye ya sara ịgba nri na ofe ya mmiri. Ọmụmaatụ *Nza na Obu* i.a. 22

**9. Nkuko (ịchọta okwu)**

Mbe bụ onye okwu na ụka na-atọ ka mmanụ aṅụ. Mgbe niile, ọ na-ekota otu okwu maọbụ ọzọ. Mgbe ụfọdụ, ọ naghị apụtacha na nke a ọ kotare, ọ dabanyekwa na nke ọzọ. Ọtụtụ mgbe ihe ndị a na-aghọ ya ahịa. Ọmụmaatụ *Nza na Obu* ia. 22

Na nchịkọta, ihe e jiri mara Mbe karịrị akarị. Anyị ga-achọpụta na mgbe a na-anụ akụkọ ifo dị icheiche gbasara Mbe, otu ihe pụtara ihe bụ na aghụgbọ ya na-ajọ omume ya niile na-aghọkarị ya ahịa.

Ndị Igbo na-atụ n'ilu sị "Mbe ghọchaa aghụghọ ya niile nkata ekpudo ya bụ onye aghụghọ. Ihe kpatara na Mbe ghọchaa aghụghọ, a bịa n'ikpeazụ ntata ekpudo ya bụ n'ifo bụ ihe e ji akụziri ụmụaka ihe. N'ihi ya, e mere akụkọ ifo ka ezi ihe na-emeri ajọ ihe. E mere akụkọ ifo ka mma na-agba elu karịa njọ, ka ụmụaka wee mụta na ọ dịghị mma ị na-eme ajọ omume. Ọ dị nnukwu mkpa ka ihe ndị ọ na-eme na-aghọ ya ahịa, ka e wee kọwaara ụmụaka na ajọ ihe ndị ahụ adịghị mma. Ọ bụrụ na Mbe rụchaa arụrụ ala gafere, ọ ga-adịzi ụmụaka ka ajọ ihe ọ na-ebute ezigbo ihe. Ọ bụ n'ihi nke a ka agwa Mbe jiri dị oke mkpa n'ifo Igbo.

**NNWALE ONWE**

1. Kedụ ụdị agwa ndị a na-ewebatakarị n'ifo?
2. Kedụ ihe ndị ọzọ e jiri mara agwa mbe n'akụkọ ifo Igbo?

## 4.0 MMECHI

E nwere ọtụtụ ihe na-abụ agwa n'akụkọ ifo Igbo. Mmadu, mmuo, anumanu, aja, oka, eluigwe, na ihe ndi odinachi ndi ozo nwereike ibu agwa n'ifo Igbo. Oge ụfọdụ, Chukwu na-abụkwa agwa, ma n'ebe a, ewepụtaghị ya dịka agwa n'ihi na mmadụ na Chi ya anaghị azọ aka mgba. E ji agwa ndị a dịgasị icheiche egosipụta ụdị ihe a na-ahụta na ebimndụ ndị Igbo.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta arụtụla aka n'ụdị agwa dị icheiche na agba elu n'ifo Igbo, mana agwa kachasị agba elu n'fo Igbo bụ Mbe. E ji agwa Mbe egosipụta ụdị agwa dị iche iche a na-ahụta na ndụ ndị Igbo.

## 6.0 IHE OMUME

1. Agwa kachasị agba elu n'ifo Igbo bụ agwa Mbe. Tụlee nke a.
2. Mbe bụ agwa eji amamihe wee mara n'akụkọ ifo ndị Igbo. Were ọmụmaatụ dabara adaba wee kọwaa nke a.
3. E ji agwa ndị na-egba elu n'ifo Igbo egosipụta ụfọdụ agwa a na-ahụta nandụndị Igbo.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Anyachebelu, A. L. (2016). Retrieving the Pearls of the Past: An Adaptation of Igbo Folk-Narrative Strategies into Video Film. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*. Vol. 1, (1). 170-190.

Anyachebelu, A. L. (2017). Ọnọdụ Akụkọ Ifo N'Oge Ugbu a. *Igede Igbo: A Journal of Igbo Studies*. Vol. 3 (1), 100-112.

Anyachebelu, A. L. (2019). Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. A Ph.D Thesis, University of Lagos.

Achọlọnụ, C.O. (n.d.) "The Igbo folktales as imaginative literature". In *Aṅụ (Ed.), A magazine of Igbo culture.* 1(3), 71 – 77.

Azuonye, C. (1987). Igbo Folktales and the Evolution of the Idea of Chukwu as the Supreme God of Igbo Religion, *Nsukka Journal of Linguistics and African Languages,* (1), 43-62.

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. PhD Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nnabuihe, C. B. (2005). *Nwaada Lọọlọ (Akwụkwọ Akụkọ Ifo Ndị Igbo).* Lagos: Ofonaogu Projects Africa Limited.

Nwadike, U.I. (2001). *Éké na Égwùrùgwù*. Ibadan: Heinemann Educational Books.

Nwadike, U.I. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature*). Onitsha: Africana Publishers Ltd.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*

# YUNIT 4 ASỤSỤ N'AKỤKỌ IFO

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna Kpọmkwem
 3.1 Asụsụ n'akụkọ ifo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Ihe Omume
7.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit a, a ga-akọwa ụdị asụsụ a na-enwe n'ifo, kwuo etu asụsụ ifo si dị iche n'asụsụ agụmagụ ndị ọzọ na ihe kpatara ya.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ụdị asụsụ a na-enwe n'ifo Igbo
- kọwaa etu asụsụ ifo si agbado ụkwụ na ndị e bu n'uche akọ akụkọ ifo
- ihe kpatara asụsụ ifo ji adị iche n'asụsụ agụmagụ ndị ọzọ.

## 3.0 NDỊNA KPỌMKWEM

### 3.1 Asụsụn'Akụkọ Ifo

Mgbe a na-ekwu maka asụsụ ifo, anyị na-ekwu maka akanka n'ifo, ya bụ, ụdị akanka na-agba elu n'akụkọ ifo. Asụsụ na-adị mfe, na-agakwa werewere; ọ naghị ata akpụ, o naghịkwa adị ntụhị. Ilu na atụmatụ okwu anaghị agbakewe elu n'ifo. Ihe kpatara nke a bụ na ọ bụ ụmụaka ka a na-ebukarị n'uche efo ifo. Ọ bụ ndị okenye na-aghọta ilu na atụmatụ okwu. Uche ụmụaka etolitebeghị ịghọtacha ilu na atumatu okwu. N'oge ụfọdụ a na-enwe usoro nkenke ahịrịokwu ga n'akụkọ. A na-enwekarị ụdịrị nkebiokwu na mmalite na mmechi akụkọ. Iji maa atụ, na mmalite, e nwere ike inwe "Mbe díí …dìì" maọbu "Ifo diı́´…dìì". Ọ bụrụ akụkọ na-akụzi eziakparamagwa, ọkọakụkọ nwere ike ịsị: "Akụkọ a na-akụziri anyị na anyị etosighị izu ihe abụghị nke anyị". Ọ bụrụ akụkọ "Ya mere" Ọkọọ ga-akwụsị ya n'ụzọ a: "Nke a bụ ihe kpatara …."

Kwunkwukwa na-agba elu mgbe ụfọdụ, dịka n'abụ ifo. Nke a na-akwalite ndanusoro, na-enyekwa aka ime ka a na-echeta akụkọ. E nwekwara ike ịhụ mkparịtaụka. Nke a na-enye aka ịma ka agwa dị. E nwere ike isi na kwunkwukwa mee ka emereme rịa elu maọbụ webata egbeokwu.

Ihe ọzọ na-akwalite akanka n'ifo bụ iwebata enyookwu, isite n'ihe ndị anyị nwere ike ịhụ maọbụ ịchọpụta.

**NNWALE ONWE**

- Mgbe a na-ekwu maka asụsụ ifo, kedụ ihe ị chere a na-ekwu maka ya?

## 4.0 MMECHI

Asụsụ ifo kwesịrị ịdị mfe ma gakwa werere. Ọ kwesịghị inwe akpalaokwu na atụmatụokwu ndị ọzọ; ha digodu ya, ha kwesịrị ipe mpe. Nke aga-enyere ụmụaka aka ịghọta ihe akụkọ ifo na-ekwu maka ya.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na yunit a elebara anya n'ụdi asụsụ eji emebe akụkọ ifo; asụsụ ga-edo ewụ na ọkụkọ anya.

## 6.0 IHE OMUME

1. Asụsụifo na-adị mfe, na-agakwa werewere; ilu na atụmatụ okwu anaghị agbakewe elu n'ifo. Tụlee ka nke a siri bụrụ eziokwu dịka o siri metụta akụkọ ifo.
2. Were ọmụmaatụ dabara adaba kọwaa asụsụ dịka o si metụta akụkọ ifo.

## 7.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Achọlọnụ, C.O. (n.d.) "The Igbo folktales as imaginative literature". In *Aṅụ (Ed.), A magazine of Igbo culture.* 1(3), 71 – 77.

Anyachebelu, A. L. (2019). Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. A Ph.D Thesis, University of Lagos.

Azuonye, C. (1987). Igbo Folktales and the Evolution of the Idea of Chukwu as the Supreme God of Igbo Religion, *Nsukka Journal of Linguistics and African Languages,* (1), 43-62.

Chukwuma, H. (1994). *Igbo Oral Literature, Theory and Tradition.* Abak: Belpot (Nig).

Chukwuma, H. (1974). *The Oral Tradition of the Ibos*. PhD Thesis, University of Bamingham.

Emenanjọ, E. N. (ed.) (1977). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales.* Ibadan: Oxford University Press.

Nnabuihe, C. B. (2005). *Nwaada Lọọlọ (Akwụkwọ Akụkọ Ifo Ndị Igbo).* Lagos: Ofonaogu Projects Africa Limited.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J. (1991). The Igbo Folktales: Performance Conditions and Internal Characteristics. *Folklore Forum.* 24 (1), 19-34.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A Book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nwadike, U.I. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nigeria: Ifunanya.

Nwadike, U.I. (2001). *Éké na Égwùrùgwù*. Ibadan: Heinemann Educational Books.

Nwadike, U.I. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature*). Onitsha: Africana
Publishers Ltd.

Uba-Mgbemena, A. (1985). 'The Roles of *Ifo* in the Training of the Igbo Child'. *Journal of the Folklore Society.*